
# Ọgụgụ na Odide IGBO IZUGBE na Juniọ Sekọndịrị

# 3



*Ọgụgụ na Odide Igbo Izugbe na Juniọ Sekọndịrị* bụ akwụkwọ usoro ọmụmụ Igbo e depụtara dị ka kọrikulọm nke Gọọmentị nabatara maka nkuzi Igbo n'afọ atọ mbụ nke ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị siri tụzie.

E kere isi ọ bụla n'ime akwụkwọ ndị a ụzọ ise: agụmagụ, ụtọasụsụ na nsoroedide, ajụjụ nnwale, ederede a họrọ ahọ, na nleru anya (n'eserese ma ọ bụ foto) na edemede so ya. E nwekwara arụmarụ maka inwale onye na-agụ akwụkwọ ndị a, ya na ime ka agụụ ịgụ na ide Igbo na-agụ ya mgbe niile.


Longman Nigeria Limited
ISBN 0 582 63924 7
ISBN (Nigeria) 978 139 336 X


Ọgụgụ na Odide IGBO IZUGBE na Juniọ Sekọndịrị 3

# Ọgụ́gụ́ nà Ọ̀dídé Ìgbò Ìzùgbé nà Júnị́ọ́ Sékọ̄ńdìrị̀ 3

*si n'aka*


P. Akụjụọobi Nwachukwu
C. Ohiri Aniche
Victor Manfredi
G. Kemjika Anọka
E. 'Nọlue Emenanjọ


Longman Nigeria

**Longman Nigeria Limited**
Ikeja, Agbor, Ibadan, Owerri, Zaria and representatives throughout Nigeria.

All rights reserved. No part of this publication may be reproduced, stored in a retrieval system, or transmitted in any form or by any means, electronic, mechanical, photocopying, recording or otherwise, without the prior permission of the copyright owner.

© *Imo State Ministry of Education, Owerri 1988*

ISBN 0 582 63924 7
ISBN 978 139 336 X

*Printed by: Fasunle (Nig) Co. Ltd., Ikeja, Lagos. Tel: 961633*



# Ndịnàya

Nkwupụrụ ........ (viii)
Okwu nkọpụta ........ (ix)

**Isi 1**
Yunit 1A: Agụmagụ: Ụkabụilu na Soromchịa ........ 1
1B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Akaraedemede ........ 3
1CH: Ederede a họrọ ahọ: Mgba osikapa na ofe ọkwụrụ 6
1D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ........ 8
IE: Ajụjụ mmụgharị ........ 10

**Isi 2**
Yunit 2A: Agụmagụ: Abụ: Agwọ ........ 13
2B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Iwu nsụpe ndị ọzọ ga ... 15
2CH: Ederede a họrọ ahọ: Udo ka mma ........ 17
2D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ........ 19
2E: Ajụjụ mmụgharị ........ 21

**Isi 3**
Yunit 3A: Agụmagụ: Abụ: Ọmụmụ nwa ........ 24
3B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Nkejiasụsụ ........ 26
3CH: Ederede a họrọ ahọ: Ala anyị nwere ezigbo ọdịniihu ........ 29
3D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ........ 32
3E: Ajụjụ mmụgharị ........ 34

**Isi 4**
Yunit 4A: Agụmagụ: Akụkọ ifo: Mbe na Aǹụ ........ 37
4B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Ngwaa: Nkenụụdị ha ... 40
4CH: Ederede a họrọ ahọ: Ụgụrụ ........ 43
4D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ........ 45
4E: Ajụjụ mmụgharị ........ 47

**Isi 5**
Yunit 5A: Agụmagụ: Akụkọ ala Ọ̀wère ........ 50
5B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Ngwaa ........ 53
5CH: Ederede a họrọ ahọ: Leta Nwannụnụ ........ 55
5D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ........ 57
5E: Ajụjụ mmụgharị ........ 59

**Isi 6**
Yunit 6A: Agụmagụ: Abụ: Ụnụ niile ........................... 62
6B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Ngwaa na mgbakwụnye 66
6CH: Ederede a họrọ ahọ: Mmadụ ka Ijere n'ọdụ ụgbọ mmiri ........................................ 69
6D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 71
6E: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 73

**Isi 7**
Yunit 7A: Agụmagụ: Ejije: **Ugomma** ......................... 76
7B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Nghọtasinụ̀ụ̀da ........ 78
7CH: Ederede a họrọ ahọ: Emume Iri Ọ̀nà ................ 81
7D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 83
7E: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 85

**Isi 8**
Yunit 8A: Agụmagụ: Ǹrì ........................................ 88
8B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Ahà ...................... 91
8CH: Ederede a họrọ ahọ: Ọsọndụ agwụ ike ........... 94
8D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 96
8E: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 98

**Isi 9**
Yunit 9A: Agụmagụ: Nkenke akụkọ a rọrọ arọ: Ọkụkọ ntị ike na-anụ ihe n'ite ofe ................................ 101
9B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Mkpọaha na ihe na-eso ya .................................................... 103
9CH: Ederede a họrọ ahọ: Nwata kwọọ aka ........... 105
9D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 107
9E: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 109

**Isi 10**
Yunit 10A: Agụmagụ: Abụ: Ihe ndị na-eme .................. 112
10B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Ahịrị kendabe ........... 114
10CH: Ederede a họrọ ahọ: Tobi nọdụ mma .............. 116
10D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 118
10E: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 120

**Isi 11**
Yunit 11A: Agụmagụ: Agwụgwa ................................ 123
11B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Ahịrịùkwù .............. 125
11CH: Ederede a họrọ ahọ: Onye kwe chi ya ekwe ...... 127
11D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 129
11D: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 131

**Isi 12**
Yunit 12A: Agụmagụ: Akụkọ: Oru Ọ̀wèrè ..................... 134
12B: Ụtọasụsụ na nsoroedide: Njirimara mkparịta ụka 137
12CH: Ederede a họrọ ahọ: 'Kpọtụba' na akwà ndị ọzọ ... 139
12D: Nnyocha eserese na odide ǹkà ...................... 141
12E: Ajụjụ mmụgharị ........................................ 143

Ọ̀kàasụ̀sụ Igbò dị n'ime akwụkwọ a. ............... 146

# Nkwupụrụ

Anyị ji ohere a na-ekele, nga ọ dị ukwu, ụlọ ọrụ Gọọmentị nke na-ahụ maka mgbasa ozi, Omenala, Ụmụ ndị na-etolita etolite na Egwuregwu (y.b. 'Ministry of Information Culture, Youths and Sports', na Bekee) nke Imo Steeti, maka ikike ha nyeere anyị ibipụta foto ha niile dị n'ime akwụkwọ a.



# OKWU NKỌPỤTA

Akwụkwọ a bụ nke atọ ndị otu anyị chepụtara ma depụtakwa maka ikuzi ngalaba ọmụmụ Igbo niile na Juniọ Sekọndịrị. Onye gụziri akwụkwọ a ga-achọpụta na nnukwu echiche bara na ndepụta ihe dị na ya. Anyị edeghị akwụkwọ (ndị) a maka na anyị chọọrọ ka Igbo nụ olu anyị. Anyị edekwaghị ha maka na anyị chọọrọ ego. Mbunuuche anyị n'idepụta akwụkwọ ndị a bụ ka ụmụ akwụkwọ ndị nọ na Juniọ Sekọndịrị hu akwụkwọ ndị rijuru afọ ha ga-agụ. Anyị maara nke ọma na ọ dịla ọtụtụ akwụkwọ ndị ọzọ, ndị ọzọ dekwara maka Juniọ Sedọndịrị. Mana dị ka ndị be anyị si ekwu, nke m bụ nke m, nke anyị abụrụ nke anyị.

Tupụ anyị edewe nke anyị, anyị lebara anya nke ọma n'akwụkwọ niile ndị dị ugbu a maka Juniọ Sekọndịrị. Anyị gakwara lezie anya na **'Kụrịkulum nke Gọọmentị (etiti) nabatara maka nkuzi Igbo n'afọ atọ mbụ n'ụlọ akwụkwọ Sekọndịrị na Naịjịrịa'**. Mgbe anyị mechara ihe ndị a, anyị hụrụ ṁmá na njọ ha, wee chepụtazịa echiche ndị nke anyị. Ọ bụ ezi okwu na a ga-ahụ ụfọdụ ndịiche na nsụpe na n'ihe ndị ọzọ n'akwụkwọ anyị ndị a. Anyị emeghị ihe ndị a maka na anyị chọọrọ ịbụ 'nkemdịiche'. Mbunuuche anyị bụ na asụsụ Igbo kwesịrị ịdị na-eto kwa mgbe, kwa mgbe. Ihe ọ bụla enweghị isi gaeme ka ọ ghara ito, anyị anabataghị ya ọ bụladị na o nweela ȯtù ndị kụrụ ha ntu. Asụsụ Igbo karịrị otu onye ma ọ bụ ȯtū ȯtù. Ihe dị na ya bụ aka weta, aka weta, ọnụ eju.

Anyị gbalịrị nke ọma izipụta ihe niile anyị dere n'akwụkwọ a n'asụsụ ga-ekwa ọtịta. Mana cheta mgbe niile na ụtọasụsụ na ọkaasụsụ Igbo abụghị gbata gbabà.

Ọọgọst 1988

P. Akụjụọobi Nwachukwu
C. Ohiri Anịche
Victor Manfredi
G. Kemjika Anọka
E. 'Nọlue Emenanjọ

# 1A Agụmagụ: Ụkabụilu na Soromchịa

**Ndumọdụ**
Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụpụta akụkọ abụọ ndị a ka e siri depụta ha.

i) *ṄGWERĖ*

N'otu mgbe, Ngwere siri n'elu ọjị daa n'ala. Mana o merụghị ahụ ọ bụla. Ya elee onwe ya, lee ndị nọ ebe ahụ gburugburu, mana ọ dịghị onye nọ n'ebe ahụ toro ya na ọ bụ dike. Ya ekwe n'isi ma were anya ọjọọ lee ndị nọ ebe ahụ, wee kwuo sị, 'Ọ bụrụ na ndị mmadụ etoghị m, aga m eto onwe m'. Ọ bụ nke a kpatara na mgbe niile a hụrụ ngwere a ga-ahụ ka ọ na-ekwe n'isi,

ii) *OKWU NÀ ỤKÀ*

N'otu mgbe, otu onye aha ya bụ Okwu gawara n'ebe nna nwaanyị ọ chọrọ ịlụ. Aha nwaanyị ahụ bụ Ụkà. Mgbe Okwu ruru n'ebe nna Ụkà, nna Ụkà jụrụ ya aha ya. Ya asị na ọ bụ Okwu. Nna Ụkà ajụọ ya ọzọ, ya asị, 'nna anyị ukwu, aha m bụ Okwu'. Nna Ụkà ajụkwaa ya nke atọ, ya azakwa ya na ọ bụ Okwu. Nna Ụkà jiri sị ya, 'nwa m, ị ga-abịa lawa. Olee etu Okwu ga-esi alụ Ụkà? Olee etu Okwu na Ụkà ga-esi ebikọ n'otu ọnụ ụlọ? Ụlọ Okwu na Ụkà bi, udo anaghị adị na ya'.

Onye ọ bụla ga-agbalị kọpụta oyiri ụmụ nkenke akụkọ abụọ ndị a. Ụdị akụkọ abụọ ndị a na-adịwa ka akụkọ ifo. Mana ha abụghị akụkọ ifo. Ụdị akụkọ nke mbụ ka a na-akpọ **ụkabụilu** ma kpọọ nke abụọ **soromchịa.** Ụnụ lezie anya ụnụ ga-ahụ ihe ndị a maka ụkabụilu na soromchịa:

- i) Ha na-adị nkenke karịa akụkọ ifo.
- ii) E jighị 'Chakpii' ebido ha ka e si eme n'akụkọ ifo.
- iii) A naghị akọ akụkọ ndị a naanị n'onwe ha dị ka e si eme akụkọ ifo. A na-akọnye ụkabụilu na soromchịa n'ime okwu a na-ekwu. A na-eji ha akụziri ndị mmadụ ihe, adụ ndị mmadụ ọdụ ma na-enye ndị mmadụ obi ụtọ.
- iv) Obere ndịiche dị n'etiti ụkabụilu na soromchịa: Soromchịa na-akpa ọchị karịa ụkabụilu. N'akụkọ nke abụọ, a ga-ahụ na ọ bụ nghọta so 'okwu na ụka' butere ọchị dị na ya.

**Ajụjụ nnwale**

1 Mgbe Ngwere siri n'elu daa,
   a) Ọ gbara ọsọ pụọ
   b) O merụrụ ahụ
   ch) O merụghị ala
   d) Ọ jara onwe ya.

2 'Ọ bụrụ na ndị mmadụ etoghị m, aga m eto onwe m' pụtara na
   a) mmadụ kwesịrị ito onwe ya ụfọdụ mgbe.
   b) mmadụ too onwe ya, ọ dị mma.
   ch) mmadụ kwesịrị ito onwe ya mgbe niile.
   d) mmadụ kwesịrị ito onwe ya mgbe na ọ dịghị onye toro ya.

3 Otu na ndị a, abụghị ezi okwu.
   a) Ụkabụilu bụ akụkọ.
   b) Akụkọ ifo bụ akụkọ.
   ch) Soromchịa bụ akụkọ.
   d) Ụkabụilu bụ akụkọ ifo.

4 a) Ebe masịrị onye ọ kọọ ụkabụilu.
   b) Ọ bụ n'ime okwu ka a na-etinye ụkabụilu.
   ch) Ọ bụ n'ime okwu ka a na-etinye soromchịa.
   d) Soromchịa na ụkabụilu yiri onwe ha karịa akụkọ ifo.

5 a) Soromchịa na ụkabụilu abụghị akụkọ nke aka ha.
   b) Soromchịa na ụkabụilu abụghị akụkọ ndị zuru oke.
   ch) Akụkọ ifo na-atọ ụtọ karịa soromchịa na ụkabụilu.
   d) Soromchịa na ụkabụilu bụ akụkọ nke aka ha mana a na-etinye ha n'ime okwu.

6 Otu na ndị a adịghị n'ihe ndị ụkabụilu na soromchịa, na akụkọ ifo jiri yie onwe ha;
   a) usoro na ọdịdị ha
   b) agwa ndị dị n'ime ha
   ch) nkuzi ha
   d) a na-akọ ha akọ.

7 Zipụta nke ọma otu oyiri dị n'etiti ụkabụilu na soromchịa.

8 Zipụta nke ọma otu ndịiche dị n'etiti ụkabụilu na soromchịa.

9 I chetara etu ụkabụilu siri nweta aha ya?

10 I nwere ike ichepụta etu soromchịa siri nweta aha ya?



# IB Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Akàràedemede**

Ọ bụ nnukwu ihe nwute na ndị mmadụ anaghị ejicha ya kpọrọ ihe: ọtụtụ anaghị eche na ọ bụ ihe kwesịrị mmata ebe ụfọdụ na-eche na mbido na ngwụcha akàràedemede kwụsịrị na kpọm na rịkọm. Akàràedemede bụ ihe ndị na-eme ka ọgụgụ gaa werewere: ha na-egosi ebe olu na-ala elu ma ọ bụ lọ ala, ma ọ bụ ahịrịokwu. N'ụzọ ọzọ, a na-ejikwa akàràedemede egosi ihe onye kwuru ma ọ bụ ahịrịokwu e si n'akwụkwọ ọzọ webata n'edemede.

Akara ụfọdụ ndị anyị na-ahụ n'edemede bụ ndị a:

| | | |
|---|---|---|
| **kpọm** | . | nke na-egosi ngwụcha ahịrịokwu |
| **rịkọm** | , | nke na-egosi nwa obere ezumike n'ahịrị |
| **kpọrịkọm** | ; | nke na-egosi ezumike ogologo dịka kpọm |
| | ? | akara ajụjụ |
| | ! | akara mkpu |
| " " ma ọbụ | ' ' | akara ǹsere okwū |

Gị leba anya n'ederede niile dị n'akwụkwọ a, ị ga-achọpụta ụzọ anyị si na-ewebata ha n'otù, n'otù. Ka o sina dị, ụfọdụ ha kwesịrị nkọwatụ.

a) **Rịkọm,** — Akara a bụ otu n'ime ndị ụmụ akwụkwọ na-emetọsị ma ọ bụ na-ewebata aghara aghara n'ederede ha. Iwu na-eso mwebata rịkọm bụ ndị a:
   i) iji ya ekega ụmụ ihe a kpọrọ aha n'ọgbara ma ọ bụ na nsòrò: Ogu, Ada, Ibe, Udechukwu na Ọgọnnaya ga-abacha. Mgbe mmiri zowere, anwụ achawa, ndị mmadụ ebido rụwa ọrụ, obi ga-adị anyị mma. E mee elu, mee ala, obi ka dịkwa ha njọ.
   ii) iji ya egosi obere ezumike n'ahịrị dị ogologo: Onye megburu onwe ya, ya elela mmadụ anya n'ihu. Ụra tọọ ụtọ, e kwowe ya ekwowe. Mgbe chi bidoro jiwe, anyị ebido chọwa ụzọ ụla.

b) **Kpọrịkọm;** — Akàràedemede a nwere ike ịdị ebe kpọm na-adị ma ọ bụrụ na ahịrịokwu toro ogologo na-aga: Otu ụbọchị Mbè gwara ụmụ ya na ya ga-eje obodo tere anya; e mesịa, a chọpụta na o jekwaghị.

ch) **Akara mkpu!** — Akara a na-abata n'edemede mgbe ọ bụla a na-akpọ mmadụ aha n'olu ike ma ọ bụ na-eti mkpu:
   Biko, gbaanụ n'ụzọ!

Anwụọnụ m o !
Chi m egbuo m o!
Ogu! Kedụ gị?
Ngọzi! Baa n'ụlọ ọsịịsọ!

Odide nnukwu mkpụrụedemede

O nwere ihe abụọ a chọrọ ikwu gbasara odide nnukwu mkpụrụedemede na nke obere ya. Ha bụ ndị a:

a) A na-eji nnukwu mkpụrụedemede ebido ahịrịokwu ọ bụla.

Iri azụ na-agụ m agụụ.
Okwu ọjọọ adịghị gị mma n'ọnụ.
Oge ọ bụla a hụrụ gị, gị na ọchị.

b) A na-eji mkpụrụedemede ukwu ebido ahaaka ọ bụla, ma ọ dị na mbido, etiti ma ọ bụ na ngwụcha ahịrịokwu:

Ahụrụ m Nnenna n'ahịa.
Gịnwà, ị hùkwàrà ya?
O jere Ụmụahịa; ọ ga-esikwa ya gaa Aba.

A ga-akpachapụ anya ịhụ na e dobere iwu ndị a, tụmadị nke metụtara mkpụrụedemede ukwu. Itinye ya ebe ọ bụla ọ sọrọ onye, ma ọ bụ ide mkpụrụedemede obere ebe nke nnukwu kwesịrị ịdị anaghị egosi onye ma nsoro edemede. Itinye akàràedemede kwesịrị ekwesị so n'ihe ndị e ji ama ezigbo ederede.

**Ajụjụ nnwale**

1 Leruo anya na nkuzi e nyere, ụdịrị akara edemede ole dị ya?

2 Gosịpụta ha site n'ịkpọ ha aha n'otu n'otu.

3 Kedụ ụdịrị akara na-eso ahịrịokwu ndị a?
   a) ahịrịnkwusa
   b) ajụjụ
   ch) ahịrịmkpū

4 Kedụ aha a na-akpọ akara ndị a?
   a) ;
   b) " "

5 A na-eji rịkọmngwu egosi...

6 Tinye akara kwesịrị ekwesị n'ahịrị ndị a:
mgbe mmanya tụrụ mmadụ niile n'ọnụ ikechukwu bụ onye isi oche ebilite ikwu okwu ọ gwara ndị ọbịa sị onye na-agba akwụkwọ taa bụ nnukwu mmadụ onye a ma ama n'obodo onye ọganiihu obodo na-anụ ọkụ n'obi



Tinye akara kwesịrịnụ n'ahịrị ndị a:

7 Ogu bịara noge

8 Ogu ọ bịara noge

9 Unu jere eje

10 Unu jere eje

# 1CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa, a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị dị iche na mbipụta ha.

*MGBA OSIKAPA NA OFE ỌKWÙRÙ*

Kemgbe m hụwara **ịsọ mpi,** a hụtụbeghị m nke dị ka mgba ụmụ **nri ọdịnaala,** nke onye isi ha bụ ofe ọkwụrụ, na ndị òtù **nri mba,** nke osikapa bụ **onye ndu** ha. Ọ bụ oge ofe ọkwụrụ **na-etù ọnụ** na ọ dịghị **nri bụ ìgbà** ka ya n'ala Igbo, ka osikapa sịrị ya:

'Lịgara gị pụọ, enyi m ofe ọkwụrụ. Ọ bụ na ị maghị na **agba nke gị** agaala n'ala Igbo? Ihe na-adara gị na ụmụ nri ọdịnaala ibe gị bụzị **ekwe ụla.'**

Njakịrị a osikapa mara ya wutere ofe ọkwụrụ nke ukwuu; o wee **tụọ** osikapa **ògbò,** sị ka ha kpọpụta ndị òtù ha dum na m̀gba, wee mara ndị ga-emeri.

N'ụbọchị ịsọ mpi ahụ, o nweghị onye fọdụrụ n'ụlọ; ọha na eze, nwoke na nwaanyị, okenye na nwata — onye ọ bụla pụtara ịbịa kirie **mmemme** ahụ **pụrụ iche.**

Oge ekwe mgba kụwara, breedi na tii bu ụzọ mabata n'ọ̀gbọ. Mgbe na-adịghị anya, lekwa ka **ji mmiri ọkụ** kpọọrọ ọkụ rìràrà bata n'ọgbọ. Isì **ụdà, ụzịza, ǹcheanwū** na ihe ndị ọzọ na-ekpopụta na ya mere ka ndị ọgbakọ **kwàwara ya aka,** ma **na-etu** ya **aha** ụfọdụ. **Ọ raghị ahụ,** ji mmiri ọkụ kụtuo breedi na onye otu ya.

N'agba nke abụọ, nri ndị a na-akpọ *Spaghetti* na *Baked beans* **cheere** àgwà na ụkwa **aka mgba.** Ọgụ ha **tatụrụ ike** ma oge e mechara, àgwà na ụkwà pịara ndị nke ọzọ azụ n'ala. Etu a, kwà, kà ọtụtụ nri ọdịnaala ndị ọzọ jiri merichaa nri mba ndị ha na ha sòrìtàrà mpi. A na-ekwuzi ekwu etu ụ̀gba siri chìe **salad ọnū n'àlà,** ka ọ bụ etu mmanya nkwụ siri **kụnyere beer ajụ n'anya?**

N'ikpeazụ, mgba mmadụ dum na-eche wee ruo. **Egèlegē** mgba akụbeghị akụ oge osikapa konyere *Chicken Cecilia* aka n'olu bata n'ọgbọ. Na nke ha, ofe ọkwụrụ na ụtara ji teere egwu, **rère urè** na-abata. Ụ̀zụ̀ na àgharā dapụ̀tàrà n'ọgbakọ, mgbe onye ọ bụla na-abịakete nso, ịhụzi ha nke ọma. Anụ na azụ, **ịsam** na eju, **ose nwa àbùbà,** akwụkwọ nri dị iche iche, ihe dum asụọ chịm chịm n'ime ofe ahụ. Isì ya ǹkịtị mere ka onye ọ bụla ragharịwa ire, ma lowa asụ. Dị ka **a tụrụ anya,** mgba a bụ nke **takarichara akpụ̀.** Osikapa na **ògbò** ya **siri oke ọnwụ,** ma n'ikpeazụ, ofe ọkwụrụ na ụtara ji nwụpịara ha n'ala. Ozigbo, ebe dum kpowa ọkụ, ọtụtụ mmadụ maba n'ọgbọ, bulie ofe ọkwụrụ na nri ọdịnala ndị ọzọ elu. Mụ onwe m gbakwara ọsọ soro ha ikekwa, na oriri ga-ada n'ebe ahụ.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri depụta ya na bọọdụ.

| *OKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| ịsọ mpi | |
| nri ọdịnala | |
| nri mbà | |
| onye ǹdu | |
| na-etu ọnū | |
| nri bụ ịgbà | |
| àgbà nke gị | |
| ekwe ụlā | |
| ǹjàkịrị | |
| tụọ ... ògbò | |
| mmemme ... pụrụ ichè | |
| n'ògbọ | |
| ji mmiri ọkū | |
| ụdà | |
| ụzịza | |
| ǹcheanwū | |
| tatụrụ ike | |
| chie ... ọnū n'àlà | |
| egèlegē | |
| rere urè | |
| ịsam na eju | |
| osè nwa àbụ̀bà | |
| ògbò | |
| siri oke ọnwū | |

## 1D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 1E Ajụjụ mmụghari

1 Ngwere ewere anya ọjọọ lee ndị ahụ pụtara na .......
   a) anya ngwere dị njọ
   b) anya ya amaghị mma
   ch) o wepụtara anya ọjọọ
   d) omume ha wutere ya.

2 'Ọ bụrụ na mmadụ etoghị m, aga m eto onwe m' pụtara na ...
   a) mmadụ kwesịrị ito onwe ya ụfọdụ mgbe
   b) mmadụ too onwe ya, ọ dị mma
   ch) mmadụ kwesịrị ito onwe ya mgbe niile
   d) mmadụ kwesịrị ito onwe ya mgbe na ọ dịghị onye toro ya.

3 Otu na ndị a bụ okwu ụgha:
   a) akụkọ ifo bụ akụkọ
   b) soromchịa bụ akụkọ
   ch) ụkabụilu bụ akụkọ
   d) ụkabụilu bụ akụkọ ifo.

4 Otu na ndị a adịghị n'ihe ndị ụkabụilu, soromchịa, na akụkọ ifo jiri yie onwe ha:
   a) usoro na odịdị ha
   b) agwa ndị dị n'ime ha
   ch) nkuzi ha
   d) a na-akọ ha akọ.

5 Akaraedemede ndị a kpọro aha ebe a bụ ...
   a)
   b)
   ch)
   d)

6 Họrọ nke bụ ezi okwu maka 'kpọm':
   a) ọ na-egosị obere ezumike n'ahịrị
   b) ọ na-egosị ngwụcha nnukwu ezumike n'ahịrị
   ch) ọ na-egosị ngwụcha ahịrịokwu
   d) ọ na-ajụ ajụjụ.

7 E ji mkpụrụ edemede ukwu ebido ...
   a) ngwụcha ahịrịokwu
   b) ahịrịokwu ụfọdụ
   ch) aha niile
   d) mbido ahịrịokwu.



8 Ngwere si n'elu ...... daa.
   a) ọ́jị̄
   b) òjị
   ch) ọ́jị̀
   d) ọ̀jị̀

9 Kedu nke dabara?
   a) Anyị gara ahịa.
   b) Ha ga, ahịa.
   ch) Lee ha?
   d) Ndị Igbo bụ otu agbụrụ na Naịjirịa.

10 Dezie ma tinye akara kwesịrịnụ n'ahịrịokwu ndị a:
   a) Ogu bịara n'oge
   b) Ogu ọ bịara n'oge
   c) Ụnụ jere eje
   d) Ụnụ o jere eje

11 Olee nke na-adabaghị?
   a) Ofe ọkwụrụ turu ọnụ.
   b) Osikapa mara ofe ọkwụrụ njakịrị.
   ch) Osikapa tụrụ ofe ọkwụrụ ògbò.
   d) Breedi na tii na ji mmiri ọkụ mepere mgba.

12 Olee nke bụ ezi okwu?
   a) Mgba agba nke abụọ ataghị akpụ ma ọlị.
   b) Naanị 'beer' meriri nri ọdịnaala cheere ya aka mgba n'ime òtù nri mba.
   ch) Ụzụ na aghara dara na mgba niile ha gbara.
   d) Ọ dịghị nke bụ ezi okwu.

13 'Mgba osikapa na ofe ọkwụrụ' bụ isiokwu edemede a n'ihi na ...
   a) ha abụghị nri Igbo
   b) ha ka atọ ụtọ
   ch) ha bụ ndị ndụ
   d) ha gbara mgba ikpeazụ.

14 Rere úrè pụtara ...
   a) iji nganga
   b) ịgba ọtọ
   ch) ikonye aka
   d) ime mkpọtụ.

15 ... bịara kirie mgba a
   a) Ụmụaka sọọsọ

b) Ndị ichie sọọsọ
ch) Ọha na eze
d) Ndị ọgaranya

16 Mgbe breedi na tii batara n'ọgbọ ......
   a) ekwe mgba ka ga-akụ
   b) Naanị otu onye fọdụrụ n'ụlọ
   ch) mmanya nkwụ akụnyeele 'beer' ajụ n'anya.
   d) ekwe mgba akụwala.

17 Edemede a na-ekwu ihe ...
   a) merela eme
   b) na-eme eme
   ch) ga-eme eme
   d) a chọghị ka o mee.

18 Onye dere edemede a ...
   a) kwadoro mmeri nri ọdịnaala meriri
   b) kwadoro ka nri mba merie
   ch) kpọrọ mgba a asị
   d) o nweghị nke dabara.

19 Olee nke bụ ezi okwu?
   a) Osikapa siri 'lịgara gị pụọ ...'
   b) Ọkwụrụ ghara osikapa nkịtị mgbe ọ mara ya njakịrị.
   ch) Ụdara so gbaa mgba.
   d) A pịwara ụzịza ọnụ.

20 Olee nke na-adabaghị?
   a) Ụzụ na aghara dapụtara na mgba ahụ.
   b) Á tụrụ anya na mgba ikpeazụ ga-atakarịcha akpụ.
   ch) Osikapa na ogbo ya siri oke ọnwụ.
   d) N'ikpeazụ osikapa na ndị otu ya meriri.





## 2A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
A ga-ebu ụzọ gụọ abụ a ka e siri dee ya.

*AGWỌ*

O lòrò aka nà ụkwụ n'afọ yā
Ògba warawara, ire mkpịị
Ọ gwọgharịa, ò rụgharịa
Dị kà onye ṅụrụ mmanya
Mà ṁgbè ọ hụ̀rụ̀ anụ ōriri
Ọsọ ābụrụ ụ̄fịọ — ọ!
Ò naghī akpagha ahịhịa
N'ihì àhụ yā na-achị dị kà ọkwụ̀rụ̀

Ò gà-àbụ nwanne Ekweñsu?
Anya yā nà-àcha mmeē mmeē
Isi yā nà-àkụ ibubu
N'ihì nà ya kà ọ pà ùdù ọgwụ̀
Ǹkè o jì àbụgbu anụ ōriri
Ǹkè o jì àlụsị onye irō ọ̀gụ̀
Ya nà ṁmadụ̀ ejīghị anya àhụ ōnwe hā
Ihe ogologo nwa mmụ̄ọ.

*J.C. Obienyem.*

Onye ọ bụla ga-agba mbọ gụpụta abụ a ka e siri dee ya. A ga-agụ ya ugboro olemaole iji nwetachaa ihe ọ na-ekwu maka ya.

A gụzie abụ a nke ọma, a ga-ahụ na ihe ọ na-ekwu maka ya bụ agwọ na ụfọdụ ihe ndị e jiri mara ya.

Abụ a nwere nkeji ma ọ bụ *stanza* abụọ. *Stanza* ọ bụla nwere ahịrị asatọ.

Na stanza nke mbụ ọ malitere kọwa ka o siri bụrụ na agwọ enweghị ụkwụ na aka, mana ọ na-agba oke ọsọ. Agwọ na-aga, ọ dị ka ike adịghị ya ma ne-emekwa dị ka onye mmanya na-egbu. Mana ozigbo agwọ hụrụ erimeri o gosi na ọ dị ike, na o nwere akọ na ọ dịkwa nkọ. Agwọ na-aga ọ naghị eme mkpọtụ ọ bụla, maka na ahụ ya na-amị ka ọkwụrụ. Nke a kpatara na ọ dịghị akagha akwụkwọ ma ọ bụ ahịhịa ọ bụla n'ime ọhịa.

Na stanza nke abụọ ọ gakwara n'ihu ịkọwa na agwọ bụ nwanne Ekwensu. Cheta ihe e kwuru maka agwọ **n'Akwụkwọ Nsọ**. Anya agwọ na-acha ọbara ọbara o ji achọ ihe ọ ga-egbu. Ọ bụ n'isi agwọ ka ngwa ọgụ ya dị—nsi ahụ o ji abụgbu onye iro ya ma ọ bụ ihe ọ chọọrọ iri. O mechiri abụ a site n'ikwu na agwọ na mmadụ dị n'iro. N'ihi ya mmadụ anaghị eji anya ya ahụ agwọ, agwọ anaghị ejikwa anya ya ahụ mmadụ. Ọ bụ nke a kpatara e jiri kpọọ ya nwa mmụọ dị ogologo.

### Ajụjụ nnwale

1 Ihe kpatara agwọ ji agwọghari bụ maka na
- a) ọ dị ogologo
- b) ahụ ya na-amị amị
- ch) o nweghị ụkwụ na aka
- d) o loro ihe kara ya.

2 Ike agwọ dị
- a) n'ọsọ ọ na-agba
- b) n'ahụ ya na-amị ka ọkwụrụ
- ch) n'isi ya
- d) n'ogologo ya.

3 Otu na ndị a esoghị akọwa uru dị n'ahụ agwọ ji na-amị amị.
- a) ọ na-aga n'akpaghaghị ihe ọ bụla
- b) ọ dịghị ofele ijidenwụ ya
- ch) o nwere ike ịgafe ebe ọ bụla n'enweghị nsogbu ọ bụla
- d) ọ dị ogologo.

4 Anụ a kọrọ maka ya n'abụ na-arụghari arụghari maka na:
- a) ọ chọrọ izonahụ mmadụ
- b) ọ dị ogologo
- ch) ọ na-akpụ n'afọ ya
- d) ọ na-akpụ n'afọ ya ma dịkwa ogologo.

5 'Ire mkpịi' pụtara

6 'Udu ọgwụ' bụ

7 Chọpụta otu myiri n'abụ a.

8 Chọpụta mbụrụ anọ n'abụ a.

9 Zipụta ebe atọ e nwere mmemadụ n'ạbụ a.

10 I chere na e detara abụ a?



## 25 Ụtọasụsụ na nsoroedide

### Iwu nsụpe ndị ọzọ ga

O nwere otu nnukwu ihe dị iche n'Igbo na asụsụ dị ka Bekee. Nnukwu ndịiche a na-apụtakarị ihe mgbe ọ bụla onye Igbo meghere ọnụ ikwu okwu. Ihe a bụ olilo ụdaume kenlaazụ nke a na-akpọ òliloāzụ.

Oliloazụ na-egosi onwe ya oge ọ bụla ụdaume abụọ na-eso onwe ha, ma ọ bụ n'otu mkpụrụọkwu ma ọ bụ na ngwụcha otu mkpụrụokwu nà ná mbido nke ọzọ. Ọ bụ oliloazụ a na-ebutere ụmụ akwụkwọ mgbagwoju anya na nsụpe Igbo: ọ na-eme ka ha na-ede Igbo dị ka o si na-ada ha na ntì. Ka anyị gosi ọmụma atụ òlémaòlé.

| *IHE KWESỊRỊ ODIDE* | *ETU Ọ NA-ADÀ NA NTÌ* |
|---|---|
| Nye ya ego | Nyieego |
| Ọ hụrụ ya | Ọ hụrịa |
| Ụlò akwā | Ụlàakwā |
| Okwu egō | Okweegō |
| nke a | nkaa |
| m̀gbè a | m̀gbàa |
| ǹkè afọ̄ a | ǹkàafāà |
| Ogùike | Ogìike |
| Ekeanyanwụ | Ekaanyanwụ |
| Ekeọ̀ma | Ekòọma |
| Ọ̀dọemēnam | Ọ̀demēnam |
| Ọ̀zọemènà | Ọ̀zemènà |
| Ụkàegbū | Ụkèegbū |
| Ụzọ̀echī | Ụzèechi |
| Ìdeātọ | Ìdaātọ |
| Amaifekē | Amiifekē |
| Ekwuluọbịa | Ekwulọọbịa |
| Enugwū Àgịdị | Enugwāàgịdị |
| Ụmụọhịagụ | Ụmụ̄ọ̄hịagụ̄ |
| Ọkpụàlà | Ọkpaàlà |
| Obòamā | Obàamā |
| Obòọhịā | Obòọhīa |

E lee anya n'ọmụma atụ ndị a, a ga-achọpụta ihe dị iche na ndezite ndị dị n'aka ekpe na mkpọpụta ha dị n'aka nri. Nsụpe nke aka ekpe ka a na-akpọ nsụpe kàèsiriede, ebe nke aka nri bụ kàèsiriàkpọ. Nsụpe Igbo anyị kwesịrị ịbụ nke kaesịriede oge niile, n'ihi na nsụpe kaesiriakpọ bụ nsụpe nke oliloazụ gbanwerela.

Nsụpe kaesiriede, dị ezigbote mkpa n'ụtọasụsụ Igbo: e soro ụdị

nsụpe a, ikewasị mkpụrụokwu na nkeji na nkeji anaghị arakwa ahụ chaa; esoghị ya bụ iwebata ihe mgbagwoju anya ma na nkewasị mkpụrụokwu ma na nkanye akara ụdaolu n'ahịrị ọ bụla. Ọ bụghị sọ naanị nke a, nsụpe kaesiriede na-egosipụta ihe mkpụrụokwu ọ bụla pụtara na mọfịm na mọfịm.

**Ajụjụ nnwale**

Ụdịrị nsụpe abụọ anyị nwere ike ịhụ n'Igbo bụ:

1 nsụpe ______
  na
2 nsụpe ______
3 Ihe na-ebute nsụpe kàèsìrìàkpọ ______
4 Nsụpe e kwesịrị idenụ bụ nke ______
5 Uru ụdị nsụpe a bara bụ na ______
6 Ọ na-emekwa ka nkanye ______ dị mfe.
7 Oliloazụ na-apụtakarị ihè, oge
  a) ọ bụla mkpụrụokwu na-eso ibe ya
  b) ọ bụla e nwere ndakọrịta ụda
  ch) ụdaume na-eso ụdaume ọzọ
  d) ụdaume na mkpọniimi gakọrọ.
8 Oliloazụ na-ebute nsụpe
  a) kaesiriakpọ
  b) ndakọrịta ụdaume
  ch) kaesiriede
  d) nke na-eme ka odide dị mfe.
9 Olee etu a ga-esi akpọ, ma dee:
  i) Nke ya.
  ii) Ha adị-azụ ahịa.
  iii) Ụzọ̀ amaka.
10 Gosipụta mgbanwe oliloazụ nwere ike iwebata na nsụpe mkpụrụokwu ndị a:

| | |
|---|---|
| i) ụdaolu | iv) ụdaala |
| ii) egbeokwu | v) Obiefuna |
| iii) iroanya | vi) nwaiwu |



## 2CH Edemede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta.

*UDO KA MMA*

**O teela** o metụwara m n'ahụ; m nọrọ, **akpata oyi** na-awụ m, anya **na-adọ m** dị ka mgbe ihe akwā ga-eme m. **Nrọ** m rọziri n'abalị taa bịara mejuo m ahụ oyi — nrọ ọnwụ **mfù**, ọbara na-eru, agwọ na-ehigide mmadụ.

'Obinna, ị gaghị ebili n'akwa taa? A sị na ụbọchị Satọdee, na nwata agaghị apụta, mara nke a ga-emere nne ya?'

Olu nne m ruru m ntị, ma obi ọjọọ ekweghị m si n'akwa kulie. Kedụkwanụ ihe m na-apụta ịbịa ime? **Ụwa jọgbuziri onwe ya** n'ogige ndị uwe ojii ebe anyị bi n'Enugwu. Ndị okenye enweghịzị nke ya na ibe ya na-ekele; anyị bụ ụmụaka enweghịzị onye a na-ekwe ka ya na ibe ya gwurịta egwu. Kemgbe abalị anọ a lụrụ **ọgụ ọnwụ** n'ogige anyị, oke **iro** na **ịkpọ asị** dapụtara n'etiti mmadụ dum. Ihe na-ewute m bụ na ọ bụ nzuzù ụmụ ntakịrị butere okwu a; kama ha **ga-akwụ n'ahịrị** na pọmpụ, onye o ruru, o kuru mmiri nke ya, ha malitere zọwa onye ga-ebu ụzọ gbara mmiri. Ọgụ wee daa n'etiti ha. Mgbe ha tiweziri mkpu, na-ebe akwa, ka ndị nne ha ụfọdụ gbapụtara. N'emeghị eme, ezigbo ọgụ na **àkọmọnū** su ebe niile — ndị e mepụrụ ọbara, ndị a tara arụ, ndị a tọ̀rọ̀ akwà. Ọ bụzị **ndị agbata obi** ụfọdụ bịara **gbòo** ọgụ ahụ. Ngwanụ, ọgụ kwụsịrị, mana, **mmekọrịta mmadụ na ibe** ya n'ezi anyị kwụsịkwara. Iwe gbatara m n'obi ka m chetara na mụ na ndị enyi m enweghịzị ike igwurịta egwu; tụmadị ụbọchị taa bụ Satọdee, anyị gàārà agbamiela bọọlụ kemgbe ụtụtụ. Oleekwanụ ihe m na-ekuli n'àkwà ime?

'Ọkụ o! Ọkụ o!!'

Mkpu kpọ̄wara n'ezi mere ka m malite n'ebe m dina. Ka m nyopụrụ anya na windo, lekwa ka **ahụrụ̀** si n'azụ ebe anyị nwere kichin na-akwụpụta. Fịam! Agbapụla m n'ezi. Chineke e? Ọ bụghị ntakịrị ọkụ na-agba na kichin mama Pita. Nwaanyị ahụ, ụmụ ya, na ndị ezi anyị ụfọdụ nahụ ekute mmiri n'ike n'ike, iji menyụọ ọkụ ahụ. Ma ọkụ na ahụrù nahụ agalị elu elu, na-achọ ịgafere n'ụlọ kichin ndị no **nso. Ndị agbata obi** anyị ndị ọzọ bịara tinyewa aka imenyụ ọkụ ahụ, tupu ndị **ụlọ ọrụ 'Gbanyụọ Gbanyụọ'** bịazie menyụruo ya ala.

Ekelere m Chukwu na ọkụ ahụ agafeghị **n'ụlọ òbibi**, ma ọ bụ

meruọ onye ọ bụla ahụ. Ma, ajụwara m onwe m ma ọ bụ etu Chukwu jiri chọọ igosi anyị na mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị mkpa, na **udo** ka mma.

Ugbu a gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
| --- | --- |
| ùdo | |
| o tèela | |
| akpata oyī | |
| nà-adọ́ m̄ | |
| nrọ | |
| mfù | |
| ụwa jọgburu onwe ya | |
| ọ̀gụ̀ ọnwụ̄ | |
| iro | |
| ịkpọ̄ asị | |
| ahịrī | |
| àkọmọnụ | |
| ndị agbata obi | |
| mmekọrịta mmadụ na ibe ya | |
| ǹso | |
| ndị ụlọ ọrụ 'Gbanyụọ Gbanyụọ' | |
| ụlọ òbibi | |



## 2D Nnyocha eserese na odide ǹkà

### Ndụmọdụ

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abù ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 2E Ajụjụ mmụghari

1 O loro aka na ụkwụ n'afọ ya pụtara na:
  a) aka na ụkwụ agwọ dị n'ime afọ ya
  b) agwọ loro ha elo
  ch) o zoro ha ezo n'ime afọ ya
  d) agwọ enweghị aka na ụkwụ.

2 Ihe kpatara agwọ ji agwọghari ma na-arụghari bụ na:
  a) o nweghị ụkwụ na aka
  b) o dị ogologo
  ch) ike adịghị ya
  d) ahụ ya na-achị achị.

3 'Nwa mmụọ' a kpọrọ agwọ pụtara na:
  a) agwọ bụ nwa ndị mmụọ
  b) agwọ bụ nwa onye mmụọ
  ch) agwọ bụ ajọ anụ
  d) agwọ bụ mmụọ.

4 Abụ a nwere
  a) ahịrị iri na isii
  b) ahịrịokwu iri na isii
  ch) nkeji iri na isii
  d) stanza iri na isii.

5 Kedụ nke e detere nke ọma?
  a) E nwere m uwe atọ.
  b) Enwerem uwe atọ.
  ch) E nwerem uwe atọ.
  d) Enwere m uwe atọ.

6 Olee onye detara nke ya?
  a) Ị gatọ n'ụwaa?
  b) Ị ga-atọ n'ụwa a?
  ch) Ị ga-atọ nụwa a?
  d) Ị ga-ato na ụwa a?

7 Olee nke na-enweghị ihe ọ pụtara?
  a) ákwà
  b) àkwà
  ch) ákwá
  d) ákwā.

8 Olee nke a nà-edetaghị n'usoro kaesiriakpọ?
   a) Ọkpaala
   b) Ekọọma
   ch) Ọzọemena
   d) Nkaafaa.

9 Olee nke e detara n'usoro kaesiriede?
   a) Ụka-egbu
   b) Ụkaeegbu
   ch) Ụkaegbu
   d) Ụkaregbu.

10 Oliloazụ na-egosi onwe ya mgbe ọ bụla
   a) ụdaume abụọ na-eso onwe ha
   b) mgbe mgbochiume bu uzọ
   ch) na ngwụcha otu mkpụrụokwu nà ná mbido nke ọzọ
   d) Ha niile abụghị ezi okwu.

11 Kedụ nke na-abụghị mgbaama ihe gaje ime?
   a) akwa ụmụaka na-ebe
   b) akpata oyi
   ch) nrọ
   d) anya ódúdó.

12 Obinna achọghị ibili n'ihi na:
   a) ụbọchi ahụ bụ Satọdee
   b) Ụwa jọgbuziri onwe ya
   ch) o nwekwaghị onye ya na ya ga-agba bọọlụ
   d) Oke iro na ịkpọ asị dị n'ogige ha.

13 Nsogbu dapụtara site na:
   a) nzuzu ụmụaka
   b) ụmụaka akwụghị n'ahịrị na pọmpụ
   ch) ọgụ dara n'etiti ụmụaka na ibe ha
   d) ụmụaka malitere zọwa mmiri azọ.

14 Olee nke ndị mmadụ na-emeghị?
   a) nkọrọmọnụ
   b) mmepụ ọbara
   ch) ogbugbo ọgụ
   d) nchịrịmọchị.

15 Chineke chọrọ igosị ndị mmadụ na udo ka mma site na
   a) n'ọkụ ọgbụgba ahụ
   b) ọgụ ụmụaka na ndị nne ha lụrụ
   ch) ọkụ agafeghị n'ụlọ obibi
   d) mmekọrịta mmadụ na ibe ya dị mkpa.

16 Olee nke bụ ezi okwu?
   a) N'ogige ndị uwe ojii ....
   b) iwe na ọnụma adịghị
   ch) oke iwe na ịkpọ asị dị
   d) naanị ụmụaka nọ n'uju.

17 Obinna kelere Chukwu n'ihi na ...
   a) ọkụ ahụ aghaghị ngwuru ya
   b) ọkụ ahụ nyụrụ n'ikpeazụ
   ch) ọtụtụ mmadụ tiri mkpu
   d) Ọkụ ahụ agafeghị n'ụlọ obibi ma ọ bụ merụọ onye ọ bụla ahụ.

18 Ndị ọrụ 'Gbanyụọ Gbanyụọ' bụ
   a) ndị bịara kirie ebe ọkụ na-agba
   b) ndị gara kpọọ ndị gbanyụrụ ọkụ
   ch) ndị ọrụ ha bụ ịgbanyụ ọkụ
   d) ndị ọrụ ha bụ imenyụ ọkụ ụrịmụ.

19 Olee nke bụ ezi okwu?
   a) Obinna kuliri n'ihi na ụbọchị ahụ bụ Satọdee.
   b) Obinna achọghị ikuli n'ihi na nri ụtụtụ adịghị.
   ch) Obinna kuliri n'ihi na ọkụ na-agba be ha.
   d) Obinna kuliri n'ihi na ọ nụrụ mkpu.

20 Ọkụ ahụ ekweghị ndị mmadụ agbanyụ n'ihi na ...
   a) taya dị n'ụlọ ahụ
   b) mama Pịta anọghị ya
   ch) ndị 'Gbanyụọ Gbànyụọ' abịaghị n'oge
   d) ọ bụghị ntakịrị ọkụ.

## 3A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**

Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụọ abụ ndị a ka e siri dee ha.

*ỌMỤMỤ NWA*

i) Ụnụ besa akā n'àlà
Bìri ihe ọma bịara ǹgà m oo
Bìri ihe ọma
Ụnụ besa akā n'àlà
Bìri ihe ọma bịara ǹgà m oo
Bìri ihe ọma
Ụnụ besa akā n'elū
Bìri ihe ọma bịara ǹgà m oo
Bìri ihe ọma
Ụnụ tinye akā n'ukwù
Bìri ihe ọma bịara ǹgà m oo
Bìri ihe ọma
Ụnù tinye akā n'ikpèrè
Bìri ihe ọma bịara ǹgà m oo
Bìri ihe ọma.

ii) Ǹzọ̀tọ n̄zọtò, m̀ zọ̀rọ nwā n'ọkpà
Ǹzọ̀tọ n̄zọtò, m̀ zọ̀rọ̀ nwā n'ọkpà
Ebe onye ējela,
Ya zọ̀rọ nwā n'ọkpà
Ọ na-èje nkū
Ya zọ̀rọ nwā n'ọkpà
Ọ na-èchu mmīri
Ya zọ̀rọ nwā n'ọkpà

Ǹzọ̀tọ n̄zọtò zọ̀rọ nwā n'ọkpà
Ǹzọ̀tọ n̄zọtò zọ̀rọ nwā n'ọkpà.

Onye ọ bụla ga-agba mbọ gụpụta abụ abụọ ndị a dị ka e si eme ya.

Abụ abụọ ndị a bụ 'abụ ọmụmụ nwa' y.b, abụ ndị a na-abụ n'ebe a na-añụrị ọñụ na a mụtara nwa ọhụrụ. Ọ bụ ụmụ nwaanyị na-abụkarị abụ ndị a ma ha gaa ile nwaanyị ibe ha mụrụ nwa. N'ụdị abụ ndị a, a na-ekele Ọbasị bi n'elu ka o si enye nwa. A na-ekelekwa ya ka e si mụta nwa n'udo. Ndị bịara ileta nwa ọhụrụ na-arịọkwa Ọbasị ka o mekwaara ha ihe ọma ka o siri meere nwaanyị ibe ha. Ọ bụ nke a kpatara e jiri kwuo n'abụ nke mbụ na ebe ọ bụla e besara aka ka e nweta ihe (nwa) dị mma: ma ọ bụ n'ala, ma ọ bụ n'elu, ma ọ bụ n'ukwù ma ọ bụ n'ikpere.

Ọzọ kwa, n'abụ nke abụọ a na-arịọ ka nwa bịara mmadụ ebe ọ bụla ha jere ma ọ bụ ihe ọ bụla ha na-eme: ma ha na-esi nri, ma ha na-eje nkụ, ma ha na-echu mmiri.

**Ajụjụ nnwale**

1 Abụ ọmụmụ nwa bụ abụ a na-abụ
 a) mgbe a chọrọ nwa
 b) ebe a mụrụ nwa
 ch) iji too nwa ọhụrụ
 d) iji too nwaanyị mụrụ nwa.

2 Abụ nke mbụ
 a) na-ezipụta na nwa dị n'elu
 b) na-ekwu na nwa si n'elu
 ch) na-arịọ na ihe ọ bụla mmadụ emela ka nwa rute ya aka
 d) na-ebi ọma nwa.

3 Abụ nke abụọ na-ekwu na:
 a) a na-azọta nwa n'ụkwụ
 b) nwa dị ebe dum
 ch) ihe ọ bụla mmadụ emela nke ọma na ọ ga-erite uru ya
 d) onye rịọsie Ọbasị arịrịọ, nwa ga-abịara ya n'ihe ọ bụla ọ na-eme

4 Gbalịa chọta otu abụ ọmụmụ nwa ọzọ ma depụta ya.

5 Olee ihe ndị dị iche dị n'abụ nke gị na abụọ ndị a?

## 3B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Nkejiasụsụ**

Anyị ahụla na Igbo nwere nkejiasụsụ asaa ndị a: **aha, nnọchiaha, nkọwaaha, ngwaa, nkwuwa, mbuụzọ na njikọ.**

i) Ka anyị were mkpụrụokwu olemaole maa atụ:

| | |
|---|---|
| -ma (mmā) | ọma<br>mma<br>àmaà<br>ọmarịcha |
| -jọ (njō) | ajọ<br>ọjọō<br>njọ<br>njọkọrọ |
| -cha | ọcha<br>ọ̀cha/ụ̀cha<br>ọ̀chịcha<br>ǹchịcha |
| -ji | òji<br>ojiì<br>ǹji<br>njinji |

Anyị ga-ahu na anọ n'ime nkọwaaha dị n'asụsụ Igbo so na mmepụta ndị a. Ha bụ:

ọma, ajō/ọjọọ, ọcha, ojii

ii) Ọtụtụ mkpọaha Igbo sikwa na ngwaa. Ọmụma atụ ụfọdụ kwadoro okwu a bụ ndị a:

| *Ngwaa* | *Mkpọaha si na ya* |
|---|---|
| -me | emume, òmùme, m̀mèm̀me, òmume/ìmume; òme; |
| -dì | ǹdìdì, òdìdì, |
| -gbu | ògbu, m̀gbu, ògbugbu, egbugbu, |
| -kpụ | ọ̀kpụ, mkpụmkpụ, ọ̀kpụkpụ/ìkpụkpụ, ọkpụkpụ, |
| -kè | òkè, òkìkè, Ekè |
| -kọ | akụkọ/akịkọ, òkụkọ, nkụkọ, akọmakọ. |

Ọmụma atụ ndị a niile na-egosi na ngwaa bụ sọ naanị nkejiasụsụ Igbo nwere ike ịmụta ụmụ. N'ime ngalaba asụsụ ndị a, sọọsọ abụọ dịkarịchara ibe ha na mkpa, ha bụ aha na ngwaa. A bịa n'abụọ ndị a, otu bụ isi sekpụ ntị, ya bụ ngwaa.



Ngwaa nwere ọnọdụ pụrụ iche n'asụsụ niile dị n'ụwa. Ọ bụ ya bụ ǹkò jikọtara ngalaba asụsụ niile; e wepụ ngwaa, asụsụ agaghị enwe isi. Ma a bịa n'Igbo, ngwaa weere ọnọdụ pụtakarịrị ihe dịkwa iche. Ụfọdụ ndị ọkachamara n'ụtọasụsụ Igbo akpọọla Igbo asụsụ gbadoro ụkwụ na ngwaa; ihe butere nke a bụ na ọ bụ sọọsọ ngwaa bụ nkejiasụsụ na-ewe mgbakwụnye; ọ bụ site sọ naanị ngwaa ka anyị nwere ike imepụta okwu ọhụrụ ndị ọzọ bụ mkpọaha na nkọwaaha. Mmụbawanye mkpụrụokwu nke a ka a na-akpọ mmebeokwu.

**Ajụjụ nnwale**

1 Kedu nke bụ ezi okwu n'ime ndị a? Igbo nwere nkejiasụsụ ...
- a) anọ
- b) ise
- ch) isii
- d) asaa.

2 N'ime nkejiasụsụ ndị a niile, nke kachasị ibe ha mkpa bụ
- a) mkpọaha
- b) nnọchiaha
- ch) ngwaa
- d) nkọwaaha.

3 Ụzọ ihe abụọ mere ka nkeji a dịkarịchaa oke mkpa n'asụsụ anyị maka na ...
- a) naanị ya ezuola ịbụ ahịrịokwu
- b) ọ bụ ya bụ nko jikọtachara ndị ọzọ
- ch) ọ dị mkpa n'asụsụ niile
- d) o nweghị nkeji ọzọ dị ka ya.

4 Ọ bụ sọọsọ nkeji asụsụ a
- a) na-amụta mkpụrụokwu ndị ọzọ n'Igbo
- b) na-anọ n'etiti ahịrịokwu
- ch) anaghị achọ ihe dịka nkwuwa
- d) ka nsụpe ya na-adị nnọọ iche.

5 Ọ bụ agwa ndị a niile kpatara e ji akpọ Igbo
- a) asụsụ ụdaolu
- b) asụsụ ukwe
- ch) asụsụ gbadoro ụkwụ na ngwaa
- d) asụsụ gbadoro ụkwụ na mkpọaha.

6 A na-esi na ngwaa emepụta nkejiasụsụ ndị a:

7

8 'Ukwu' bụ otu nkọwaaha Igbo anyị na-amaghị ______ o siri na ya pụta.

9 Site n'isi ngwaa bụ -kwu, anyị nwetere mkpọaha ndị a: okwu, òkwukwu, ekwurekwu, òkwú, òkwugò

10 Nkejiasụsụ ndị ọnụọgụ ha pere mpe bu· ______ na ______



# 3CH Edemede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na ınkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*ALA ANYỊ NWERE EZIGBO ỌDỊNIIHU*

'Kedu ọrụ ị ga-achọ ịrụ na ngwụcha agụmakwụkwọ gị?'
Nke a bụ isiokwu **ụmụ amaàlà** anyị ụfọdụ tụlere n'izu ụka gara aga, na program redio a na-akpọ **'Nnọ̀kọ ntoroọbịa'.**

**Onye ndu** mkparịta ụka ahụ malitere site n'ịkọwa na n'oge nna nna anyị ha, ọrụ a na-arụkarị bụ ịkọ̀ ugbō, ma ọ bụ ịzụ ahịa; ma, n'ụwa ugbu a, e nwere imirikịtị ọrụ ndị mmadụ nwere ike ịrụ. Nke ka nke bụ na ndị nwaanyị na-esozi na-amụ ọrụ aka dị iche iche, hapụ ichekwube naanị ịlụ di. Nwa okorobịa mbụ kwuru okwu ekwetaghị na ọ bụ sọọsọ ọrụ ugbo na ịzụ ahịa ka a na-arụ **n'oge gboo.** Ọ jụkwara: 'Kedụkwanụ maka ndị **ọkọ̀ azụ,** ndị òkpụ ite, ndị dibịa, dinta, diochi na ndị ọzọ? A na-enwebukwa obodo ụfọdụ, **njirimara** ha bụ **ọrụ ǹkà** dị iche iche ha na-arụ, dị ka ndị Ọkā **na-akpụ ụzū,** ndị Nkwere na-apị **egbe,** ndị Enuanị na ndị Akwete **na-ekwe akwa,** dịrịgawa.'

N'okwu sotara, otu nwa agbọghọ kwuru **mmasị** ya n'ebe ọrụ dibịa Bekee nọ; ọ sị na-nke a ga-enye ya oghere inyere mmadụ ibe ya aka, mana, **ọ gaghị àna ya** ịlụ di, n'ihi na ya kwetara na ùgwù nwaanyị bụ di. N'ebe a ka otu nwa okorọbịa **ghọbiri** na nwunye ya agaghị arụ ọrụ dibịa Bekee ma ọ bụ nọọsụ, maka na ọ ga-ewute ya ma ha gawa ọrụ abalị. Otu nwa agbọghọ ọzọ **dọnyere ya ụkwu,** na ọ ka mma nwaanyị ịnọ n'ụlọ, na-elekọta ụmụ ya, na na-azụpụta ha n'ezi agwa. Ịnọchite obodo ya **n'ụlọ ọchịchị** bụ ihe masịrị otu nwata nwoke ọzọ; etu a ka ya ga-esi nwee ike weta **mmepe obodo** ya.

'Ngwa **gbado anya** ka ụnụ **kwụwa aka ụnụ ọtọ** n'oge nke ụnụ!' Olu nwata nwoke ọzọ nyewara **ndụmọdụ** a. 'Anyị bụ ndị ga-abanye n'òtù ndị agha ga na-ele ụnụ dị ka ebe **ọgankwọ̀** na-ele nwa **uriom;** otu nzọhie ụkwụ, egbe eburu **nwa sịịsịị**' ọ tụrụ n'anya na mmadụ hiri nne na-ezube ịbanye n'ọrụ ndị agha, ma ọ bụladị ndị nwaanyị ụfọdụ chọrọ ịbanye na **ngalaba ndị agha ikuku,** ka ha wee soro na-akwọ ụgbọ elu

'Akụ fesịa, ọ daara awọ.' Ilu a ka otu nwata ọzọ jiri malite okwu nke ya. 'Ụnụ si n'ọnwa na **kpakpandò** lọta, ụnụ ga-achọ ihe ụnụ ga-eri. Ebe ạ ka anyị bụ ndị ọrụ ubi batara. Na ngwụcha agụmakwụkwọ m, aga m ala n'ubi nna m, gbaso usoro ọhụrụ, wee na-emepụta nri n'ụ̀ba.'

Ọtụtụ ọrụ ndị ọzọ ka a rụtụchara aka, dị ka ịkwā akwà, ịkpụ ihe ọkpụ, nkuzi, njinịa, **ọka ikpe,** na ndị ọzọ. N'okwu mmechi ya, onye ndu mkparịta ụka siri,

'Ndị ọma na-ege ntị, ụnụ anụlanụ uche ụmụ amaala anyị banyere ọrụ ndị ha chọrọ ịrụ. Otu ihe chara anya bụ, ma ndị dọkịtọ, ma ndị ọchịchị, ma ndị ga-azụpụtawa ụmụaka, ha dum bụ n'obi **ọdịmma** anyị. Echiche ọma a ndị ntoroọbia anyị na-ewepụta taa, enyela anyị okwukwe na ala anyị nwere ezigbo ọdịniihu'.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| ọdịniihu | |
| agụmakwụkwọ | |
| ụmụ amaala | |
| nnọkọ ntoroọbịa | |
| onye ndū | |
| ọkọ̀ azụ̀ | |
| njirimara | |
| ọrụ ǹkà | |
| na-akpụ ụzū | |
| na-apị egbe | |
| na-ekwe akwa | |
| mmasị | |
| gaghị àna ya | |
| ghọbìrì | |
| dọnyere yā ukwù | |
| n'ụlō ọchịchị | |
| mmepe òbòdò | |
| kwùwa akā ... ọtọ | |
| ǹdụ̀mọdụ̀ | |
| ọ̀gànkwọ̀ | |
| ùrìom | |



| | |
|---|---|
| nwa sịịsịị | |
| ngalaba | |
| ndị agha ìkùkù | |
| àkụ̀ | |
| kpakpāndò | |
| ọ̀kà ikpe | |
| ọdịmmā | |

## 3D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abù ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 3E Ajụjụ mmụgharị

1 'Biri ihe ọma bịara nga m oo' gosipụtara na ọ bụ:
- a) onye nwe ụlọ na-ekwu
- b) onye bịara abịa na-ekwu
- ch) ụnụ na-ekwu
- d) nwa ọhụrụ na-ekwu.

2 N'abụ nke mbụ a na-ezipụta na
- a) nwa dị n'ukwu
- b) nwa dị n'ala
- ch) nwa dị n'elu
- d) nwa na-abịa site na ngọzi Chineke.

3 N'abụ nke abụọ a na-ekwu na:
- a) a na-azọta nwa n'ụkwụ
- b) nwa dị ebe dum
- ch) mmadụ na-erite uru n'ihe ọ bụla
- d) site n'ịrịọ Chineke arịrịọ, nwa na-abịa.

4 A na-abụ abụ nwa mgbe
- a) a na-achọ ịmụ nwa
- b) a mụrụ nwa
- ch) a na-ele ọmụgwọ
- d) a zụchara ahịa nwa.

5 'Nkejiasụsụ' dabara na ngalaba
- a) agụmagụ
- b) ụtọasụsụ
- ch) omenaala
- d) ọdịbendị.

6 Nkejiasụsụ e si na ya enweta okwụ ndị ọzọ bụ
- a) aha
- b) nkwụwa
- ch) ngwaa
- d) nkọwaaha.

7 Mkpọaha si na - **me** pụta bụ:
- a) mere
- b) ime
- ch) mee
- d) omume.



8 Nkejiasụsụ abụọ kacha ibe ha mkpa n''igbo bụ:
- a) ngwaa na njikọ
- b) nkọwaaha na ngwaa
- ch) ngwaa na mbuụzọ
- d) aha na ngwaa.

9 Mkpọaha si na - **kọ** pụta bụ:
- a) akụkọ
- b) kọọ
- ch) kọtụ
- d) kọmie.

10 Otu n'ime ndị a bụ ole nkejiasụsụ Igbo nwere:
- a) atọ
- b) asaa
- ch) asatọ
- d) isii.

11 Isiokwu na program redio e mere bụ:
- a) Ọrụ m ga-achọ ịrụ n'ọdịniihu
- b) Ọrụ ụmụ amaala anyị
- ch) Nnọkọ ntoroọbịa
- d) Agụmakwụkwọ n'ala anyị

12 Ihe e ji mara ndị
- a) Ọka bụ
- b) Nkwere bụ
- ch) Akwete bụ
- d) Ijọ bụ.

13 N'oge ndị nna nna anyị ha, naanị ọrụ ha bụ:
- a) ọrụ ugbo
- b) ịzụ ahịa
- ch) ịkwa nka
- d) ọ karịrị ndị a niile.

14 Ịkwụwa aka ọtọ pụtara
- a) ịgbatị aka
- b) ime ka aka guzoro ziziriri
- ch) ime ihe ziri ezi
- d) ime ka aka kwụrụ ọtọ n'agbagọghị agbagọ.

15 Ọ bụrụ na e nwere ndị ngalaba agha ikuku
- a) e nwekwara ndị ngalaba agha

b) e nwekwara ndị ngalaba agha ____
ch) e nwekwara ndị na-atụ ____ agha
d) e nwekwara ndị na-anọ ____ chedo.

16 'Akụ fesịa, ọ daara awọ' na mkparịta ụka a pụtara ...
a) Agarachaa 'must come back'
b) onye garachaa ma o bụ merechaa, ọ ga-achọrịrị ihe ọ ga-eri.
ch) onye ọ bụla ga-abụrịrị onye ọrụ ugbo
d) nri dị oke mkpa.

17 Olee nke bụ ezi okwu?
a) E nwere ọtụtụ ihe nka n'oge mbụ.
b) Nkwere na-akpụ ụzụ ebe ọ dị ukwuu.
ch) A maara ndị Ọka maka ịkù azụ.
d) Ndị Nri bụ ndị na-azụ ahịa.

18 Olee nke na-adabaghị dị ka o si dị n'edemede a?
a) Ugwu nwaanyị bụ di.
b) Dibia Bekee na ndị nọọsụ na-aga ọrụ kwa abalị
ch) Ọ.ka mma nwaanyị ịnọ n'ụlọ na-elekọta ụmụaka.
d) Ha niile dabara.

19 Ọtụtụ ndị nwoke anaghị alụ ndị na-arụ n'ụlọ ogwụ n'ihi na:
a) Ụgwọ ha anaghị ebu ibu
b) Ha na-aga ọrụ abalị
ch) Ha na-arụ nnukwu ọrụ
d) Ha na-adị isi ike.

20 Olee nke na-adabaghị?
a) N'agbanyeghị ihe mmadụ na-arụ, onye ahụ ga na-eri nri.
b) Ọgankwọ na-eri nwa uriom.
ch) Naanị ọrụ ugbo bụ ọrụ na-aba uru.
d) Mkparịta ụka a bụ maka nka na ọchịchọ ndị mmadụ.





## 4A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
Onyẹ ọ bụla ga-ejisi ike gụpụta akụkọ a ka e siri dee ya.

*MBÈ NA AŃỤ*

*Àhịị* *hàà!*
*Àhịị* *hàà!*
*Nkịtà nyàrà àkpà* *ǹsị àgwụ n'ọhịa*

O ruru otu ụbọchị, Mbè chọrọ ịra mmanụ aṅụ. Ya agakwuru Aṅụ ka o nyetụ ya mmanụ aṅụ, Aṅụ ajụ inye ya. Kama Mbè gaara ịchọrọ ya ekpe, ya ewere aka ike gaa ịhara aṅụ. Aṅụ asị ya zọlie. Ya ajụ. Ka ọ na-achọ itinye aka n'akpa aṅụ, Aṅụ agbaa ya tem. Ya etie mkpu, bewe akwa, sị:

Mbè jekwa, Mbè èjegharịa, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mbè jekwa, Mbè èjegharịa — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mbè wee, wee, wee, wee — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụ̀kwàrà aka m jì mee ǹtà mee ìmo — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'aka

Mbè etinye ụkwụ ya n'akpa aṅụ. Aṅụ agbaa ya. Ya ebewe akwa. Ya etinye ọnụ ya. Aṅụ agbaa ya. Ya etinye ntị ya, Aṅụ agbaa ya. Ya etinye imi ya, Aṅụ agbaa ya. Ya etinyechaa ozugbo ahụ ya, Aṅụ agbaachaa ha.

Mgbe Mbè hụrụ na ọ nweghị ike ịnara Aṅụ mmanụ ya, n'aka ike, ya ebewe akwa nke nkwuu. Aṅụ agbakaala n'ihi mkpọchi ntị ya. Ahụ dum na-afụcha ya ụfụ. Ya agụwa nkwa akwa ya, sị:'

Mbè jekwa, Mbè èjegharịa — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mbè jekwa, Mbè èjegharịa — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mbè wee wee wee wee! — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala aka m jìrì mee ǹtà mee ìmo? — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala ụkwụ m jìrì gaa ǹtà gaa ìmo? — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala isi m jìrì buo ǹtà buo ìmo? — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala anya m jìrì hụ ǹtà hụ ìmo? — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala ọnụ m jìrì kwuo ǹtà kwuo ìmo — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala ire m jìrì raa ǹtà, raa ìmo? — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Ị hụkwala ntì m jìrì nụ ǹtà nụ ìmo — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè

Ị hụkwala imi m jìrì kpọọ anwụ̀rụ̀ kpọọ ṅkanwa? — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'aka, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'ụkwụ, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'isi, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'anya, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'ọnū, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè n'ire, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀rụ̀ Mbè na ntì, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
Mm, ọ tụ̀tụ̀ Mbè n'imi, — Anata tụ̀rụ̀ be Ṁbè
*Àhịị* *hàà*

Mgbe Mbè gụchara, ya ewere ihu mgbarụ laa. Mmanụ aṅụ ka ọ ra. Ahụ ọma ka o ji laa.

Onye ọ bụla ga-agbalị gụzie akụkọ a ọfụma. A bịa n'abụ dị n'ime akụkọ a, a ga-agbalị bụọ ya ka e si eme ya: otu onye na-abụ ndị ọzọ ana-egere ma na-ekwekọrịtara ya ma o ruo.

Akụkọ a, a gụrụ ugbu a bụ akụkọ ifo. N'ime akụkọ a, anyị hụrụ agwa abụọ bụ anụmanụ: Mbe na Aṅụ. Lee na anụmanụ ndị a na-eme emume dị ka mmadụ. Ha na-ekwu oku. E ji nnukwu mkpụrụedemede ebido aha ha dị ka nke mmadụ ma ọ bụ ahaaka ọ bụla.

**Ajụjụ nnwale**

1 Otu ihe akụkọ a na-akụziri anyị bụ na:
   a) Mbè ka Aṅụ ike
   b) Aṅụ ka Mbè ike
   ch) E kwesịghị ịnara mmadụ ihe ya n'aka ike
   d) Ịma ihe adịghị mma.

2 Aṅụ ekweghị inye Mbè aṅụ maka na:
   a) ya na Mbè abụghị enyi
   b) ọ ṁa na Mbè bụ onye aghụghọ
   ch) ọ chọrọ imesi Mbè ike
   d) Mbè ejighị olu nro rịọ ya.

3 Ya agbaa ya tem pụtara na ...
   a) ọ gbara ya ozugbo
   b) ọ gbara ya ozugbo sepụ ọnụ ya
   ch) ọ gbara ya nke ọma
   d) ọ gbara ya nwụọ n'ahụ ya.

4 'Kama Mbè gaara ịchọrọ ya ekpe' pụtara
   a) karịa Mbè ga-arịọ ya arịọ
   b) karịa Mbè ga-ekpe ya ikpe
   ch) karịa Mbè ga-eji ikpe gwa ya okwu
   d) karịa Mbè ga-ekwu ya ọsịịsọ.

6 'Aka m ji mee nta, mee imo' pụtara ...
   a) aka m ji mee ụfọdụ ihe
   b) aka m ji mee ọtụtụ ihe
   ch) aka m ji mee naanị ihe ukwu
   d) aka m ji mee obere ihe na nnukwu ihe.

6 'Imi m jiri kpọọ anwụrụ kpọọ akanwa' pụtara ....
7 Anata tụ̀rụ̀ be Mbè, Mbè atụgharịa, anata pụtara ...
8 Ọ dịghị ihe ọ bụla pụrụ iche maka akụkọ ifo? I kwenyere?

# 4B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Ngwaa: Nkenụụdị ha**

Ka anyị kwukwaa ya ọzọ: ngwaa bụ isi sekpụ ntị n'asụsụ ọ bụla. Nke a bụ okwu kwuru onwe ya, onye ọ bụla ma maka asụsụ na-ewere ka ezi okwu. Ọ bụrụ na nke a bụ okwu dị mkpa maka asụsụ niile, ọ dịkachariri mkpa n'asụsụ Igbo. Ịmụta ọfụma maka ngwaa Igbo bụ ịmụta Igbo ọfụma. Na Yunit 3 n'Isi buuru nke a ụzọ, anyị kọwatụrụ ihe ngwaa ji dị oke mkpa n'asụsụ Igbo.

Ngwaa kere onwe ha abụọ n'ụzọ ha si arụ ọrụ: ngwaa na nnyemaka ngwaa.

a) Nnyemaka Ngwaa

Nnyemaka ngwaa dị n'Igbo Izugbe ehighị nne. Ha dị abụọ ma ọ bụ atọ

-nà
-gà
-kà

Ma e tinyere ha ndị ọzọ si olumbà: dị ka

| | |
|---|---|
| -jì | Mbaise/Owere |
| -dị | Ngwa/Ọnịcha |
| -ma | Ọnịcha |

ọnụọgụ ha ezuo isii.

Ka anyị hụ ka nnyemaka ngwaa ha si arụ ọrụ n'ahịrịokwu.

i) **-nà**

1a) Obi nà-èbe akwā.
b) Chìidì nà-achị ọchị.

2a) Nna m na-arụ ọrụ ugbo.
Nna m bụ onye ọrụ ugbo.
b) Okwudịlị na-anọchite anya anyị n'ụlọ ọchịchị.

3a) Òbi (nàrà ) èbe akwā
( )
(nàbù)

b) Chiidị (nàrà ) achị ọchị.
( )
(nàbù)

ii) **-gà**

4a) Uche ga-ebi n'ụlọ a.
b) Mmiri ga-ezo taa.

5a) Uchè gàrà èbi n'ụlō à.
b) M̀mirī gàrà ezò/izò taa.
ch) Ànyị gàrà irī ihe tupu anyị agawa.

iii) **-kà**

6a) Uchè àka-ēbi n'ụlọ à.
b) M̀miri àka-ezò taa.

iv) **-jì**

7a) Nnà m jì àrụ ọrụ ugbō.

v) **-dị**

| | | |
|---|---|---|
| 8a) | Ogù ǹdị irī n̄we. | (Ngwa) |
| b) | nà-èri ihe. | (Igbo Izugbe) |
| ch) | Chukwuùdị adī-ànụ ivē. | (Ọnịcha) |

vi) **-ma**

| | | |
|---|---|---|
| 9a) | Ọ̀fọdīilè amā-èje. | (Ọnịcha) |
| b) | Ọfọdīilè agāghị èje. | (Igbo Izugbe) |
| ch) | Ojukwu amā-èje. | (Ọnịcha) |

Ihe kpatara e jiri depụtachaa nnyemaka ngwaa ndị a ebe a bụ igosi na olumba bụkwa Igbo a na-asụ asụ, mana anyị nwere Igbo Izugbe a chọrọ ka a na-ede ede.

**Njirimara nnyemaka ngwaa.**

i) Ha bụ ngwaa na-enweghị ike ịrụ ọrụ ngwaa naanị ha; ya bụ na o nweghị ahịrị a ga-ahụ naanị ha.
ii) Ha na-ewekwa ụfọdụ mgbakwụnye dị ka e gosiri ebe a.

**Ajụjụ nnwale**

1 Nnyemaka ngwaa dị n'Igbo Izugbe bụ ndị a:
i)
ii)
iii)

2 Olumba ụfọdụ ndị ọzọ nwere nnyemaka ngwaa bụ:
i)
ii)
iii)

3 Olee nke bụ ezi okwu: Nnyemaka ngwaa
   a) enweghị ike ịnọ n'ahịrị
   b) enweghị ike ịnọ naanị ya n'ahịrịokwu.

4 **Nà** na-arụ ụzọ ọrụ abụọ n'ụtọasụsụ Igbo. Ọ na-egosị:
   i)
   ii)

5 Nnyemaka ngwaa nke na-egosị aspeekịtị mmaahụ n'olu Mbaise na Owere bụ



# 4CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**
A ga-agụpụta ederede a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*ỤGỤRỤ*

Ụbọchị m tetara n'ọnwa ụtụtụ, igirigi na-akụ, ahụrụ kpuchigide eluigwe na ala, oyi na-atụ, obi na-ama m mma, n'ihi **ụgụ̀rụ̀** abịala.

Ọ ga-atụ ụfọdụ mmadụ n'anya (na m na-ekwu) na ụgụ̀rụ̀ na-amasị m. N'uche ọtụtụ mmadụ, oge ụgụ̀rụ̀ dị na **mwute,** n'ihi na ọ bụ oge **ụkọ mmiri,** oge aja ụlọ na-agbakwasị, nakwa oge ma ịkpa ma ubi ji agbapịa n'ọkụ. A bịakwanụ n'ahụ mmadụ, oyi ụgụ̀rụ̀ na-eme ka **egbugbere ọnụ** kpọchaa nkụ, ma na-agbawasị; ahụ mmadụ na-esokpọkwa, **na-ewè iwèrè** dị ka ahụ agwọ.

Ekwetachara m n'ihe nsogbu ndị a ha na ụgùrù so; mana, etu a kwà ka oge ndị ọzọ e nwere n'ala Igbo siri nwechaa ihe **ǹramahụ** nke ha. **Ọmụma atụ: n'ọkọchị,** oke anwụ na-achawasị mmadụ isi, ma na-eme ka mmadụ **sie òbù.** N'oge à kwà, **òkpòmọku** na **àhịhī̀ara** na-eme ka ụra abalị ghọrọ **ụra nkịta.** Ọ̀ bụ̀zì oge **udummiri** ka ofele? **Idè** na-akwachi ma ama ma ụzọ; mmiri na-echibata n'ụlọ ụfọdụ, tụmadị **n'ụlọ akanya; akụ̀kụrụ** na **amụ̀mà** nwèkwàrà ndị ha na-egbu. Kedụkwanụ maka **anwụnta**? N'udummiri ka ha na-amụba, na-ebutere mmadụ ọrịa ịba.

Gezie ntị, nụrụ ihe mụ na ụgụrụ jiri na-adị na mma. N'ihi oke oyi na-atụ n'oge a, n'ezi anyị, n'isi ụtụtụ, a na-afụnwu nnukwu ọkụ **n'ọ̀bụmà.** Ọkụ a bidohaa nwuwe, gị hụ ka onye ọ bụla sìrì n'ọnụmara ụlọ ya na-apụta. Mgbe na-adịghị anya, òbi ahụ ejula ndị nọ n'oche, ndị nọ **n'agada,** ndị dinakwaranụ n'ọkpụkpọ; onye ọ bụla **na-anyara** ọkụ, nakwa àkparịta nkàta. Lezie ka ndị nwaanyị ga-esinye nnukwu ite ji mmiri ọkụ, ụmụaka na-ahụnye **mkpụrụ ji** n'ọkụ Ma, echekwala na a na-anọcha **ǹkịtị.** Mba! Onye nwere nke ọ na-eme ga-eweta ya ebe ahụ ndị nwoke na-akpa **akịrịka** ngwọ, ndị nwaanyị na-esi **èlù akū,** ụmụaka na-achapụ **akwarà** ji. Onye mechaa nke ya, o nyere ibe ya aka. Mgbe ji ghèrè, etu a kwa ka a ga-esi n'ọbụma pụwa, gawazie ime ihe ndị ọzọ dịịrị ha n'ụbọchị ahụ. Mụ onwe m, ọ dịghị ihe na-atọ m ka ụdị **nnọ̀kọ** a nnyarịta ọkụ, nrụkọ ọrụ, na nrikọ nri. N'oge ụgụ̀rụ̀, karịa n'oge ndị ọzọ ka ụdị oghere a na-apụtakwa.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.


| *MKPỤRỤOKWU* | *NKOWA* |
|---|---|
| igirigi | |
| ụgụ̀rụ̀ | |
| dị mwute | |
| ùkọ mmirī | |
| ọ̀zàrà | |
| egbùgbèrè ọnụ̄ | |
| na-ewè iwèrè | |
| ǹramahụ | |
| ọ̀mụma atụ̀ | |
| ọkọchị | |
| sie òbù | |
| òkpòmoọkụ | |
| àhịhīara | |
| ụra nkịtā | |
| ùdummirī | |
| idè | |
| àkanya | |
| àkụkụrụ̄ | |
| amụ̀mà | |
| anwụnta | |
| ịbà | |
| ọ̀bụmà | |
| n'òkpùkpò | |
| akịrịka | |
| èlù akụ̄ | |
| akwarà | |
| nnọ̀kọ | |
| m̀kpụrụ̀ ji | |



## 4D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 4E Ajụjụ mmụghari

1 Akụkọ a bụ:
a) akụkọ ndị okenye
b) akụkọ ndị ichie
ch) akụkọ ifo
d) akụkọ n'egwu.

2 Mmanụ aṅụ bụ:
a) mmanụ aṅụ sụpụtara
b) mmanụ aṅụ zụtara
ch) mmanụ aṅụ nwere
d) mmanụ aṅụ nyụpụtara.

3 'Tem' bụ:
a) okwu ọhụrụ
b) oyiri
ch) nghọtasinụụda
d) ilu

4 'Anata tụrụ be Mbè' pụtara:
a) Anụ a na-akpọ Anata tụrụ ọnụ na be Mbè.
b) Anata atụọla n'ụlọ Mbè.
ch) Anata tụrụ ụtụ ya na be Mbè.
d) Ihe ọjọọ adakwasala Mbè.

5 Kedụ nke bụ nnyemaka ngwaa?
a) na
b) -na
ch) n'
d) na-

6 Nnyemaka ngwaa dị n'Igbo Izugbe dị
a) atọ
b) abụọ
ch) otù
d) isii

7 Ngwaa kere onwe ya ụzọ
a) isii
b) atọ
ch) abụọ
d) anọ

8 Olee nke bụ ezi okwu?
a) nnyemaka ngwaa na-anọbichi ngwaa
b) nnyemaka ngwaa na-abanye n'ime ngwaa
ch) nnyemaka ngwaa na-enyere ngwaa aka
d) nnyemaka ngwaa na-arụ ọrụ ngwaa.

9 Ma ọ bụghị Igbo Izugbe, ọ bụrụ
a) okwu onye
b) Igbo ndị
ch) Olumba
d) Okwumba

10 Kedụ okwu ike a sụpere nke ọma?
a) na ikpeazụ
b) n'ikpeazụ
ch) n'ikpe azụ
d) na ikpe azụ

11 Anwụnta na-amụba
a) n'oge ọkọchị
b) n'oge udummiri
ch) n'agbata udummiri na ọkọchị
d) n'oge ụgụ̀rụ̀

12 Kedụ nke bụ ilu?
a) Onye rụọ, o rie.
b) Onye rie, ọ rụọ.
ch) Onye arụghị, onye erighị.
d) Ọ rụọ, o rie.

13 Kedụ nke na-adabaghị?
a) Oge ụgụrụ bụ oge ụkọ mmiri.
b) Ịkpa na ubi na-agbapịa n'ọkụ n'oge ụgụ̀rụ̀.
ch) Egbugbere ọnụ na-akpọ nkụ ma na-agbawasị.
d) Onye dere edemede a ekwenyeghị n'ihe ndị a.

14 Olee nke dabara n'ime ndị a?
a) Ụgụ̀rụ̀ enweghị uru ọ bara.
b) Naanị ọkụ ka ndị mmadụ na-anya ma a fụnwuo ọkụ ụgụ̀rụ̀.
ch) Ụmụaka na-ahụnye mkpụrụ ji n'ọkụ.
d) Ọkụ ụgụ̀rụ̀ na-eme ndị na-anya ya ahụ ha adị mfe.

15 Kedụ nke bụ ezi okwu n'ime ndị a?
a) Naanị ụgụ̀rụ̀ nwere uru ọ na aba.
b) Ọkọchị anaghị enye mmekpa ahụ.
ch) Udummiri na-amụbanye anwụnta.
d) Ọ dịghị nke bụ ezi okwu.

16 Ụgụ̀rụ̀ dị mma n'ihi na...
a) ndị mmadụ na-akọ ugbo
b) oke oyi na-atụ
ch) anwụnta na-anwụsịsị
d) ọkụ ọbụma na-achụ oyi na-atụ mmadụ.

17 Olee nke na-adabaghị?
a) Ide na-akwachi ama na ụzụ n'udummiri.
b) Anwụnta na-amụbawanye n'udummiri.
ch) Amụma na-egbu ọtụtụ mmadụ.
d) Udummiri anaghị aba uru.

18 Olee nke dabara?
a) Ọkọchị abụghị oge ụkọ mmiri.
b) Anwụ na-achagbu mmadụ.
ch) Okpomọkụ na-ebelata.
d) Okpomọkụ na ahịhịara na-eme ka ụra abalị sie ike ịrahụ.

19 Olee nke na-adabaghị?
Ọkụ bido nwuwe
a) onye ọ bụla na-apụta
b) ụmụaka na-ahụnye mkpụrụ ji
ch) onye ọ bụla na-anọrọ n'emeghị ihe ọ bụla
d) onye mechaa, o nyere ibe ya aka.

20 Olee nke bụ ezi okwu?
a) Ji ghee, a na-eri ya n'ọnụ ọbụma.
b) Ụmụaka na-anyarịta ọkụ, na-arụkọ ọrụ ma na-erikọ nri naanị ha.
ch) N'oge ụgụ̀rụ̀, karịa oge ọzọ, ka mmekọrịta na-apụtakarị ihe.
d) E richaa ji, a lasaa.

## 5A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
A ga-ebu ụzọ gụpụta akụkọ a ka e siri dee ya.

*OWÈRÈ!*

N'oge dị anya, e nwere otu obodo a na-akpọ Ụmụalụm. Obodo a dị n'Ụmụọrịị Ụrata. N'obodo a e nwere otu nwoke a na-akpọ Ọ̀hà. Ọ̀hà n'onwe ya wee mụta Arụgo. Arụgo n'aka nke ya mụtara ọtụtụ ụmụ dị ka ndị ọgaranya si eme n'oge gboo. Arụgo mụtara ụmụ nwoke ise tinyekwarị ụmụ nwaanyị ndị ọzọ. Ọ bụ ụmụ nwoke a mesịrị wube obodo ise ndị a na-akpọ Alaenyi taa: Awaka, Ìhìte, Egbu, Naze na Owere.

Akụkọ maka etu Owere siri nweta aha ya ka anyị chọrọ ịkọ ugbu a. Anyị ekwuola na Arụgo mụtara ụmụ ise. Aha ọkpara ya bụ Ekwema, ebe aha ọdụ nwa ya nwoke bụ Ndụmụọha. Mana ọ bụghị otu nne mụrụ Ekwema na Ndụmọha. Mgbe Arụgo nwụrụ, onye ọ bụla tụrụ anya na ọ bụ ọkpara ya bụ Ekwema ga-eli ya ka omenaala siri chọọ. Mana ọ gaghị etu ahụ maka na Ekwema akpahị ihe ọ bụla n'aka. N'ihi ya, Ndụmụọha zụtara ihe ndị e jiri lie nna ha: ehi na òsịnàọsịghị ndị ọzọ. Nke a abụghị arụ maka na ndị Igbo kwetara na onye ji akụ lie nna ya, ọ bụghị diọkpara gburu ya.

Ozigbo e lisiri Arụgo, nsogbu dị ukwuu wee dapụta n'etiti Ekwema na Ndụmụọha. Ndụmụọha sịrị na ebe ọ bụ ya zụtara ehi e jiri lie nna ha na ọ bụ ya ga-ewezi obi anụ na anya ya na ntị ya. Ekwema ekweghị n'ihi na ọ bụ oke ruuru ya dị ka diokpara. Ebe ndọrọndọrọ a siziri ike, a kpọrọ ndị ọha Ụrata. Ha kpebiri na mee elu mee ala na Ekwema ka oke ruuru. Ekwema wee were obi anụ bụ oke ya. Ihe a wee wute Ndụmụọha. O wee jụọ sị, 'Ò wèrela?' Ekwema wee zaa ya sị; 'O wee m. Ewerela m. Ewerela m oke ruuru m'. Bidozịa n'ụbọchị ahụ ka e jiri kpọwa Ekwema, Òwèrè. Ọ bụ site n'okwu a ka obodo a bụ isi obodo Imo Steeti siri nweta aha ọ na-aza ruo taa.

Akụkọ a bụ akụkọ ala. Dị ka anyị marala akụkọ ala abụghị akụkọ ifo. Akụkọ ifo emeghị eme. Mana akụkọ ala mere eme. Ọ bụ ezi okwu na e nweghị ike ikwu kpọmkwem mgbe o jiri mee mana nke ahụ adịghị ihe o mere. Akụkọ ala na-egosikarị etu obodo ma ọ bụ mba siri bido. Ọ



na-egosikwa ka ụfọdụ omenaala siri malite. N'ezie, ọ bụrụ na a kọ̀rụ akụkọ a gbasara ụmụ Arụgo n'isi ya, anyị ga-amata etu nnukwu emume ndị Òwèrè na-akpọ 'Oru Owèrè' siri malite.

**Ajụjụ nnwale**

1 Olee onye mụrụ Arụgo?
- a) Ọ̀hà
- b) Ekwema
- ch) Ndụmụọha
- d) Ụrata

2 N'ụmụ Arụgo niile nke bụkarịsịrị nwata bụ
- a) Ìhìte
- b) Ekwema
- ch) Ndụmụọha
- d) Ọ̀hà

3 Ihe kpatara Ekwema jiri buru Ndụmụọha ụzọ hara oke bụ na:
- a) ọ bụ omenaala
- b) ọ bụ ihe ọha kpebiri
- ch) ọ bụ iwu nna ha nyeere ha
- d) o nyeghị Ndụmụọha nsọpụrụ ruura ya.

4 Ihe kpatara ndọrọndọrọ n'etiti Ekwema na Ndụmụọha bụ na:
- a) Ndụmụọha nwere anya ukwu
- b) Ọ̀hà chọrọ ya etu ahụ
- ch) Ekwema enweghị ego ili nna ya.
- d) Onye liri nna ya ga-eri ekpe ya.

5 Otu a ndị a esoghị n'Alaenyi
- a) Egbu
- b) Ìrètè
- ch) Òwère
- d) Ìhìte

6 Otu na ndị a esoghị n'Alaenyi
- a) Emeke
- b) Egbu
- ch) Awaka
- d) Naze

7 Nna nna Arụgo ha bụ onye
- a) Naze
- b) Òwère

ch) Ụmụalụm
d) Alaenyi

8 Mgbe a sị na Ekwema 'akpaghị ihe ọ bụla n'aka', nke a pụtara na:
a) Ọ mụghị nwa.
b) Ọ bụ onye nganga.
ch) Aka na-enye ya nsogbu.
d) O nweghị ego ma ọ bụ akụ na ụba.

9 Kọọrọ ndị klaasị gị ka obodo unu siri nweta aha ya.

10 Depụta akụkọ ahụ n'akwụkwọ gị.



## 5B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Ngwaa**

O were anya na ọnụọgụ nnyemaka ngwaa dị n'Igbo niile ehighị nne, mana ngwaa dị ka aja. Ka anyị lebaa ha anya mara ka ha si akpa agwa n'ahịrịokwu.

Ngwaa niile nwere ike ikewa onwe ha ụzọ abụọ:
a) Ǹgwaā ndị
b) Ǹgwaā mme

a) **Ǹgwaā n̄dị**

Nkenuudi a jupụtara na ngwaa ndị na-egosi etu ihe siri dị ma ọ bụ ọnọdụ ya. Ha anaghị akọwa ihe na-eme eme, nke mere eme, nke ga ime eme. Ihe nke a pụtara bụ ngwaa ndị abụghị ndị m̄me.

Ndị a bụ ụfọdụ ọmụma atụ:

| | | |
|---|---|---|
| -dị | : | Ọ dị ndụ̀. |
| | : | Ha dị̀ iri. |
| -bụ | : | Ọ bụ̄ onye isî ānyị |
| -nò | : | Mmadụ̀ nọ̀ ya. |
| -gba/bụ | : | Ọ gbā ọnụ̄. |
| | | O bù ọnụ̄. |
| -kpụ | : | Nwa ahụ̀ kpụ̀ ihe n'ọnụ̄. |
| -bu | : | O bù abọ n'isi. |
| -lu/-kụ | : | Ọ kụ̄ ilu. |
| | | O lū ilu. |
| -bì | : | Ụ̀nụ̀ bì n'Ọ̀nịchà? |
| -nwe | : | Ha nwèrè ego. |
| -ba ùba | : | Ndị ebe hā bàrà ụ̀ba na mmadụ. |
| -bà urù: | : | Ụ̀dị echìche à bàrà urù. |
| -bù ibù | : | Ehi ahụ̀ bùrù nnukwu ibù. |
| -ka | : | Ọjị à kara aka. |

E lee anya n'ọmụma atụ ndị a, a ga-achọpụta na ahịrịokwu ọ bụla na-egosi ọnọdụ.

b) **Ngwaa m̄me**

Ngwaa ndị na-anaghị egosi ọdịdị ma ọ bụ ọnọdụ na-ezipụta omume. Ndị a sojenụ bụ ụfọdụ n'ime ha:

| | | |
|---|---|---|
| -gba ọsọ | : | Ọ nà-àgba ọsọ̄ nke ukwu. |
| -je ijè | : | Ọ nà-èje ijè dị kà nwaànyị. |
| -kwu okwu | : | Kèdu ndị nā-ekwu okwū? |
| -chì ọchì | : | Ì nà-achị ọchị? |
| -gbu | : | Ùnù gbụrụ òkụkò òle |

-ri : O rīela ihe ūtụtụ̀.
-gwa : Ọ gwāla ānyị ezi okwu.
-ti mkpu : Nwa ahụ̀ nà-ètikwanụ mkpū.

**Ajụjụ nnwale**

1 Nkenụụdị abụọ mbụ dị n'etiti ngwaa Igbo bụ:
  a)
  b)

2 Ngwaa n̄dị na-egosi etu ihe
  a) dị
  b) siri dị
  ch) ga-adị.

3 Ngwaa m̄me na-egosi oge dị ka mgbe ihe
  a) na-eme
  b) ji eme
  ch) mere
  d) ga-eme

4 Ọmụma atụ anọ ngwaa m̄me bụ:
  i)
  ii)
  iii)
  iv)

5 Ndịiche abụọ dị n'etiti ngwaa ndị na ngwaa m̄me bụ:
  i)
  ii)



## 5CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa, a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*LETA NNWANNỤNỤ*

Onye hapụrụ leta n'ime ụlọ klaasị ndị afọ atọ nke Community Secondary School, Akwụkwụ? Nke a bụ ajụjụ ụmụ akwụkwọ na-ajụ onwe ha ruo echi. N'ụtụtụ oge ha bịara klaasị ka ha hụrụ otu nnukwu mvelop tọ̀gbọ̀rọ̀ n'elu tebulu onye nkuzi ha. Mmadụ dum gbakọrọ na-ekiri mvelop ahụ, e sekachara ihe n'ahụ — ụmụ anụmanụ, nnụnụ, agwọ, osisi, tinyekwara nwoke na nwaanyị gba ọtọ

'Kedụ nzuzu dị nke a?'

Olu onye nkuzi chụghachiri mmadụ dum n'oche ha. Ma mgbe onye nkuzi hụziri mvelop ahụ, ya na onwe ya **kụjakwara.** O wee gụwa adresi e dere ya n'elu:

'**Onye Isi Oche**
Otu Idozi na Ichekwa Obodo
**Ngalaba** Community Secondary School
Akwụkwụ.'

**N'aka na-amatụ jiịjiị**, ọ tọrọ leta ahụ, wee gụpụtawa ya.

Ọhịa Nwa Abọsị
Akwụkwụ
20 — 11 — 87.

Ụmụnna,

Ndeewonụ! Ya **agbala** ụnụ **gharịị** ịnata leta anyị. Anyị bụ osisi ndị nọ n'ime ọhịa, ndị ụnụ na-akwado **ikpochapụ** n'elu ụwa. N'oge mbụ, **oge ụwa gba ọtọ,** anyị na ụnụ bìkòtàrà, tinyekwara ụmụ nnụnụ na anụmanụ ndị ọzọ. Onye ọ bụla nwere obi ọma n'ebe ibe ya nọ, ma na-echeta na otu Chineke kere anyị dum. Ma, ugbu a, gịnị ka anyị na-ahụ? Osisi dum, a na-egbutu; ọhịa dum, **a na-asụcha; mgbọrọgwụ** dum, a **na-abụpụta.** Osisi **ọjị, akpụ, achị, egbu** o nweghịzị nke fọrọ.

Ihe anyị sị ka anyị chetara unu bụ na onye gbakaa ute ya, ọ rahụ n'ala. Mgbe unu gbawara ọhịa ọtọ, onye ga na-ewetara unu ezigbo ikuku na **igwugwu?** Onye **ga-eche** ụmụ anụmanụ **ǹdò?** Olee ebe ụnụ ga-esi na-abụta mgbọrọgwụ dị iche iche, kà, unu **ga-echekwube** n'ọgwụ bekee? Kedụkwanụ maka mkpụrụ osisi, na nri ndị ọzọ anyị na-enye unu? Geekwanụ ntị n'olu akwa ndị mba, ebe **ụkọ**

**osisi** mere ka ala ghọrọ **ịkpa** na **ọzara**, n'enweghịzị ike emepụta nri. Anyị ji oghere a, na-akpọku unu ka ụnụ gbaa mbọ hụ na a kwụsịrị igbutu osisi, na ịsụcha ọhịa aghara aghara.

Ka Chukwu duo ụnụ n'ọrụ a.

Anyị bụ,
Ụmụnna ụnụ,
Osisi bi n'Ọhịa.

**Akpata oyi** wụrụ onye ọ bụla na-ege leta ahụ. Ma, ihe **gbagwojuru** ha **anya** bụzi onye wetara leta ahụ — o nwere osisi gara ije bịa hapụ ya, ka o nwere nwa nnụnụ butere ya?

Ugbua a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| leta nwannụnụ | |
| kụjàkwàrà | |
| Onye isi oche | |
| Ngalaba | |
| na-amatụ jijiji | |
| gba ... gharịị | |
| ikpochapụ | |
| oge ụwa gba ọtọ | |
| m̀gbọ̀rọ̀gwụ̀ | |
| na-abụpụta | |
| ọjị | |
| akpụ | |
| achị | |
| egbū | |
| igwùgwù | |
| ga-eche ... ǹdò | |
| ga-echekwube | |
| ịkpa na ọzara | |
| akpata oyi | |
| gbagwojuru ... anya | |



## 5D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 5E Ajụjụ mmụgharị

1 Akụkọ na-egosị etu Ọwère siri nweta aha ya bụ:
a) akụkọ ifo
b) akụkọ ala
ch) akụkọ nkịtị
d) akụkọ Iduu na ọba

2 Arụgo mụtara ụmụ nwoke
a) isii
b) asaa
ch) ise
d) anọ

3 Onye ka a kpọrọ aha dị ka ọkpara?
a) Ndụmụọha
b) Arụgo
ch) Ekwema
d) Owèrè

4 Nsogbu dapụtara n'ihi na:
a) Ekwema ekweghị eli nna ya
b) Ndụmụọha chọrọ ka ya lie nna ha
ch) Ekwema chọrọ iwere oke ruuru ya
d) Ndụmụọha chọrọ ka onye tụrụ ikoro waa ya eze.

5 Ndọrọndọrọ dị n'etiti Ekwema na Ndụmụọha sitere na:
a) ọ bụ onye liri nna ha ga-eri ya ekpe
b) ọha obodo tinyere ọnụ na ya
ch) Ndụmụọha kagidere Ekwema anya
d) Ekwema adịghị ego o ji

6 Kedụ nke na-abụghị ngwandị?
a) -kpụ
b) -nwe
ch) -bi
d) -gbu

7 Kedụ nke na-esoghị na ngwamme?
a) -nwe
b) -kwu
ch) -ti
d) -gba

8 Ngwandị -na-ezipụta
- a) akara
- b) ọdịdị
- ch) omume
- d) ọnọdụ

9 Ngwamme na-ezipụta
- a) akara na ọdịdị
- b) omume na ọdụdụ
- ch) ọdịdị na ọnọdụ
- d) ọdịdị na omume

10 Ọmụma atụ ngwamme bụ:
- a)
- b)
- ch)
- d)

11 Leta tọgbọrọ n'elu tebulu onye nkuzi ndị klaasị afọ nke atọ bụ leta butere
- a) mgbagharịị
- b) oke uche
- ch) amamihe
- d) nzuzo

12 Onye nkuzi n'onwe ya kụjakwara na-egosị na
- a) Onye nkuzi amaghị ihe ọ ga-eme
- b) Onye nkuzi na-asọ ihi
- ch) Ọ gbagwojuru ya anya
- d) egwu jidere ya.

13 Olee nke bụ ezi okwu?
- a) Onye nkuzi buru ụzọ hụ leta ahụ.
- b) Ọ dịghị ihe e sere na mvelop ahụ.
- ch) Nwata akwụkwọ gụpụtara ihe e dere na ya bụ leta.
- d) Ọ dịghị nke dabara.

14 Olee nke na-adabaghị?
- a) Onye nkuzi kwuru 'Kedụ nzuzu dị nke a?'
- b) A natara leta ahụ na 20-11-87.
- ch) Osisi bi n'ọhịa dere leta ahụ.
- d) Ụjọ tụrụ ọ bụladị onye nkuzi.



15 Olee nke na-adabaghị?
- a) Na mbụ osisi na mmadụ bi n'otu ụlọ.
- b) Taa, a na-achọ ikpochapụ ọhịa dum.
- ch) Obi adịghị osisi bi n'ọhịa mma.
- d) Ọ dighị nke na-adabaghị.

16 Olee nke na-adabaghị?
Osisi bi n'ọhịa...
- a) na-enye ndo
- b) na-enye ezigbo ikuku na igwugwu
- ch) na-enye mgbọrọgwụ
- d) ji obi añụrị edere mmadụ leta.

17 Onye gbakaa ute ya, ọ rahụ n'ala n'edemede a pụtara na
- a) Onye na-enweghị ute ga-arahụ n'ala.
- b) Onye ute ya dọkara, ga-etufu ya rahụ n'ala.
- ch) Onye mebie ihe na-abara ya uru, ọ taa ahụhụ ya.
- d) Onye gbutuo osisi, ọ nọdụ n'anwụ.

18 Olee nke dabara na ndị a?
- a) Ụkọ osisi ga-eme ka ala ghọọ ọhịa.
- b) Ọgwụ Bekee agaghị ezu ọnụ.
- ch) Osisi na-eto, mma na-egbutu ya.
- d) Ọ dịghị nke dabara.

19 Olee nke bụ ezi okwu?
- a) Ndụ na-atọ osisi dere leta a ụtọ.
- b) Akpata oyi wụrụ ụmụ akwụkwọ n'ahụ gbasara onye tọgbọọrọ leta.
- ch) Ụmụ akwụkwọ gụrụ ya bụ leta.
- d) Ha chọpụtara na ọ bụ njakịrị ka osisi dere leta a na-ama.

20 N'ikpeazụ ...
- a) Ha ghọtara onye dere leta ahụ.
- b) Ha ghọtara onye zitere leta ahụ.
- ch) Ha dapụrụ n'amụ gbasara ihe e dere na leta.
- d) O nweghị nke dabara.

## 6A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụọ abụ a dị ka e siri dee ya.

*ỤNỤ NIĪLE*

Ùgànị̀ dàrà n'òbòdò ụmụ̀ anụmànụ̀
Ọkụ ōkụ nà ọ̀nụ̀ma ònụ̀mà
Afọ̀ àsaà nà ọnwa āsaà
Ṁmirī atụpụghị, anwū edēreghị karịa afọ̀ àsaà.

Agụū nà-àghụpụ ụmụ̀ anū anya
Ume hā dākpùchàrà dị kà anya pīara apịa
N'ihì iruro niile kpọ̄chara nkụ
Tinye ugbū osimiri mīkpọchara amịkpọ

Mà òtù chi ọma sì àdị
Ụmụ̀ anụ n'ihu ọchị nà n'igbū ikpèrè
Ṁgbè ozi Chīneke rùrù hà ntị̀
Na o kperọ hā ụta n'agbànyèghì ajọ òmùme hā.

Ịgā n'Eluigwē bụ̀ ijè ndị nwēre ǹkà
Mà Mbè, ọkpara Àlịga, sòrò gaa
N'ihì ọ rīọkọ̀tàchàrà ụmụ̀ nnụ̀nụ̀ ugbène dī ichè ichè
Ǹke mēre ya ọ̀ bụrụ nnụ̀nụ̀ mma yā enwēghị àtụ̀.
Otù ahà ha bụ̀chà ahà a nūbèghì n'Eluigwē
Òleē ihe ha gà na-àza ṁgbè ha rùrù?
N'ihì ụmụ̀ Eluigwē dọ̀bàrà nri jī nà ofe n̄sara nā-atụ ākpịrị̄.

E tinyere n'afere, onye nụ ahà ya ọ̀ bịa para otù
N'ekwūghị ekwu n'akàghị akà,
Àmachaamihe nwa Ālịgà
Màchàrịpụta, sị nà ha dùm
Gà-ewèchere ahà n'otù n'otù
Dị kà ụmụ̀ anụ Eluigwē nàrà ème.

Ụmù nnùnù kwànyèrè ụsụ kà ọ zọba,
'E sò ndị elū, e sò ndị àlà.
Ė geghī ntì n'àjụjụ ọ jụ̀rụ̀ ahà ahụ̀



Ụsụ ụmụ̀ mmūọ nà-àgbara ọsọ̄ n'àbàlị
Kwuru nà ya màrà otū ya dīnyèrè
Ṁgbè Ùgo na-èkwu nà 'Òdogwu ọcha' bụ̀ ahā masịrị ya;
Egbe nà Ùdèlē nà-àzọ onyē gā-azaba 'O mere ọkpụkpụ'
N'ihì ụmụ̀ nnụ̀nụ̀ ndị ọ̀zọ
Nà-achọ iwèkọ̀rọ̀chà ahà niīle dī n'ụ̀wà.

Ọ̀ dịghī onye pūrụ ijìdè ibè ha n'ọchị
N'ihì ha kwùrù nà ha amāghịrị
Nà nzuzù Mbè dị ukwuù
Ǹke mēre ya iwèrè ahā dī otu ahụ̀.
Ṁgbè ha hịọ̀chàrà wowowo
Nwachakịrị Mbè nara hā aka
Weè mee kà ha mara nà ṁgbè ha rùrù n'Eluigwē
Ha gàrà na-akpọ yā 'Ụnụ̀ niīle'.

N'otù ntabì anyā ụmụ̀ Eluigwē
Būpụ̀tàrà nri jī, ofe n̄sara nà ofe ēgusi n'ime afere ọla ọcha
Ha butara nkwụ elū chāra āchà na njenje
Kpọsachara hā n'elu ọlā èdò
Ha fèrè ndị ọbịa aka na-èkwu:
'Ụnụ̀ niīle nwe ihe ndị a dùm.'

Aka ha na-apụ̀ Mbè kpọ̀ghàchìrì ha àzụ
Ịjī mee kà ndị ya nà ha sò mata ǹgà ha nọ̀rọ̀
N'ihu ndị ọbịa ibè ya, ọ jụ̀rụ̀ ụmù Eluigwē ọ̀zọ
Bikō, òleē ndị ụnū sīrị
Nwē ihe erimeri nà anụmanụ ndị a?
N'ume àlà, n'olu onye ntị ikē gà-ànụ
Ha sàrà ọ̀zọ sị:
'Ha bụ̀ màkà ụnụ̀ niīlẹ!'

*J. Chukwuemeka Obienyem.*

Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụọ abụ a. Ọ bụ ezi okwu na o toro ogologo. Mana ihe dị n'ime ya dị mfe nghọta. N'ezie, o bụ otu akụkọ ifo a maara maka Mbè na ụmụ anụmanụ gara Eluigwē, ka odee, aha ya bụ J.C. Obienyem bịara dezie ma hazie n'usoro abụ. Abụ a zipụtara ka Mbè onye aghụghọ siri baa onwe ya aha 'Unu Niīle' ka o wee buruchaa erimeri ha niile richaa naanị ya. Abụ a akọchaghị ihe mere Mbè site n'oke aha ahụ ọ zara.

**Ajụjụ nnwale**

1 Aha Egbe zara na njem ahụ bụ
  a) Amachaamihe
  b) O mere ọkpụkpụ
  ch) Odogwu ọcha
  d) E kpezighị ya ekpezi

2 Aha Ugo zara na njem ahụ bụ
  a) Amachaamihe
  b) O mere ọkpụkpụ
  ch) Odogwu ọcha
  d) E kpezighị ya ekpezi

3 Otu n'ime ndị a esoghị zipụta na ajọ ọkọchị dara n'ala ụmụ anụmanụ:
  a) ụganị dara
  b) mmiri atụpụghị
  ch) iruro niile kpọchara nkụ
  d) ụgbọ osimiri niile mịkpọchara amịkpọ

4 Chineke kpọrọ ụmụ anụmanụ ụta.
  a) ikpe
  b) oriri
  ch) mkpezi
  d) ọgbakọ

5 Otu na ndị a esoghị n'aha e turu Mbè n'abụ a.
  a) Ọkpara Alịga
  b) Ụnụ niile
  ch) Amachaamihe
  d) Nwa Alịga

6 Otu n'ihe ndị a soro zipụta na a haziri abụ a n'oge ugbu a.
  a) Eluigwe
  b) Chineke
  ch) tebulu
  d) egusi

7 Otu n'ihe ndị a soro zipụta na a haziri abụ a n'oge ugbu a.
  a) njenje
  b) afere ọla ọcha
  ch) ofe nsala
  d) nri ji



8 Aha Ụsụ zara na njem ahụ bụ
  a) Odogwu ọcha
  b) O mere ọkpụkpụ
  ch) Esò ndị elu, esò ndị ala
  d) E kwughị ya n'abụ a

9 Anụmanụ ndị riri aha pụtara ihe dị:
  a) ise
  b) anọ
  ch) atọ
  d) isii

10 Họpụta
  a) myiri atọ n'ime abụ a
  b) mbụrụ atọ n'ime abụ a
  ch) mmemmadụ atọ pụtara ihe n'abụ a.

## 6B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Ngwaa na mgbakwụnye**

Mgbakwụnye ha na ngwaa na arụkọrịta ọrụ dị ụdịrị abụọ: mgbakwụnye mgbanwe; na ndị a na-eji emepụta mkpụrụokwu ọhụrụ, ndị a na-akpọ **mgbakwụnye mgbati.**

**Mgbakwụnye mgbanwe**

Mgbakwụnye ndị a kere ụzọ abụọ:

a) otu nganiihu nke bụ a - **a-/e-**

b) nsonaazụ dịgasị iche iche.

Iji kọwapụta ọrụ ha nke ọma, anyị ga-ekewa ahịrịokwu Igbo ụzọ abụọ:

Ahịrị nkwe na ahịrị njụ

1) Ahịrị nkwe

Ndị a bụ mgbakwụnye a na-ahụ n'ahịrị nkwe.

a) Nsonaazụ Ahịrịtimiwu.

| isingwaa | | nsonaazụ | ngwaa |
|---|---|---|---|
| -ri | + | -e | rie/rìe |
| -gbu | + | -o | gbuo/gbùo |
| -gụ | + | -ọ | gụọ/gụ̀ọ |
| -ra | + | -a | raa/ràa |
| -go | + | -o | goo/gòo |
| -gọ | + | -ọ | gọ̀ọ |
| -pị | + | -a | pịa |
| -de | + | -e | dèe |

Ihe anyị ga-achọpụta ebe a bụ na ụdaume dị n'isingwaa na-esekpụ ụdaume a bụ nsonaazụ n'usoro ndakọrịta ụdaume.

b) Nsonaazụ -ru + ụdaume

Ka anyị lebakwa anya n'ahịrị ndị a sojenụ:

i) O rẹre ēre.

ii) Ekpere bàrà urù.

iii) Nwa nwaànyị ahụ̀ toro eto.

iv) Ụnụ̀ gụrụ akwụkwọ, ụmụ̀ m.

Nsonaazụ a dị iche na ndị ọzọ dị n'Igbo maka na ụdaume ya na-abụ ụdaume dị n'isingwaa. Nke a kpatara anyị ji akpọ ya bụ nsonaazụ **-ru**, ebe **u** nọchiri anya ụdaume ọ bụla dị n'isingwaa. Ọzọ kwa, ụdaolu nsonaazụ a na-abụkarịkwa ụdaolu isingwaa.

ch) Nsonaazụ aspeekịtị mmecha

Ka anyị lee anya na ngwaa dị n'ahịrị ndị a:

Anyị̄ eriela ihē.

Ǹdịdị̀ èchuola mmīri.

Ibè àgala nkū̀.

Ǹne m̄ alọla ahịa.

Ngwaa niile ndị a na-akọwa ihe mecharala eme, ya ka e ji akpọ ha ahịrị aspeekịtị mmecha. Nke ọ bụla n'ime ha nwere

i) nganiihu bụ **à-/è-**

ii) nsonaazụ abụọ **-á/-é**

iii) **-la**, bụ nsonaazụ nke ikpeazụ.

Isiokwu anyị bụ na ngwaa aspeekịtị a dị iche na ngwaa ndị ọzọ a na-ahụ n'ahịrị nkwe.

2) Ahịrị njụ

Ka anyị nyochakwaa ngwaa dị n'ahịrị ndị a:

i) Ndị ukwu ekwē̄ghị ụmụ̀ ogbènyè bàta.

ii) Ha anā̄ghị ànabàta ndị ọbìa.

iii) Ụnụ ahū̄bèghị motò m̀bụ?

iv) Anyị agabeghị ebe ahụ mbụ.

Ọmụma atụ ndị a na-egosi ụfọdụ mgbakwụnye njụ niile dị n'asụsụ anyị:

i) nganiihu **á-** ma ọ bụ **é-**

ii) nsonaazụ bụ **-ghị** na **-bèghī.**

Ahịrị ndị a bụ ụzọ gosịrị na ahịrị njụ ọ bụla nwere nganiihu na nsonaazụ. Inwe nganiihu a bụ nnukwu ndịiche dị n'etiti ahịrị nkwe na ahịrị njụ.

**Ajụjụ nnwale**

1 Mgbakwụnye ha na ngwaa na-arụ ọrụ dị nkenụụdị
 a) abụọ
 b) ise
 ch) anọ
 d) atọ.

2 Otu n'ime ha bụ mgbakwụnye
 a) nganiihụ
 b) nsonaazụ
 ch) mgbanwe
 d) nnọnịsingwa.

3 Nke ọzọ bụ mgbakwụnye
 a) ngwaa
 b) mgbatị

ch) ọdịnaala
d) mmebe.

4 Ngwaa na-adị n'ahịrị kere onwe ha ụzọ
a) asaa
b) anọ
ch) abụọ
d) atọ.

5 Kedụ nke na-abụghị ezi okwu n'ime ndị a? Nkenụụdị ngwaa ndị abụ
a) nnyemaka ngwaa na ngwaa ntimiwu
b) ngwaa keọnọdị na ngwaa mmume
ch) ngwaa mmume na nnyemaka ngwaa
d) ngwaa nkwe na ngwaa njụ.

6 Ahịrị njụ niile na-ewe
a) nnọneetiti
b) nnyemaka ngwaa
ch) nsonaazụ **-á**/**-é**
d) nganiihu **a**-/**e**-

7 Ọ bụ nsonaazụ -**a**/-**e** na-egosi ahịrị ntimiwu nkwe, ebe.

8 na-egosi nke njụ ya.

9 Depụta ngwaa ise na ntimiwu ha n'olu gị
i)
ii)
iii)
iv)
v)

10 Mgbakwụnye ka ndị n'ọnụọgụ.



# 6CH Edemede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a, a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta.

*MMADỤ KÀ IJERÈ N'ỌDỤ ỤGBỌ MMIRĪ*

**Ọdụ ụgbọ mmiri**, ma ọ bụ wọọfụ, dị ka ọ bụ ebe na-ekpokaricha ọkụ n'ala anyị. Ụbọchị m soro nwanne m gaa ibulata **ngwa ahịa** ndị ọ **tụ̀rụ̀** n'ala Bekee ka m **kpọ̀rọ̀ n'ùbu.** Ọ bụ etu ahịa si na-azụ na wọọfụ — ndị bu ibu n'isi na-agbaje **mwemwe ọsọ**; ndị kwa trọkù na-azọje ije; ndị ji **akpa ògọmabaalá** na-agaje ọkụ ọkụ. Ajụwara m ihe mmadụ dum a na-achọ. Nwanne m wee na-akọwara m na ọtụtụ ndị a na-ahụ ugbu a na wọọfụ bịara izipụ, ma ọ bụ ịgbapụta ibu; ụfọdụ bụkwanụ ndị chọrọ isò ụgbọ mmiri jee mba ọzọ, ma ụ̀dị ndị ije a ehighịzi nne, ka ha na-adịbụ n'oge gara aga.

Mgbe mkpu pụrụ m n'ọnụ bụ oge anyị ruru **n'ose.** Lee ka ọtụtụ ụgbọ mmiri hacha ka ụlọ **sìwèrè** ebe ahụ — e wezụga **ụgbọ efèrè,** ahụbeghị m ụgbọ mmiri ọzọ! Ajụwara m nwanne m etu ụgbọ ndị a siri nwee ike **na-ese** n'elu mmiri.

'Nke mbụ bụ na **òshìmìrì** ebe ha na-aga dị òmìmì, karịa ezu obodo anyị. Nke ọzọ bụ na e ji **ụgbọ njin** akwọ ha, ebe a na-èji **àmàrà** anya ụgbọ efèrè! Bịazie lee ka ndị mmadụ si na-aba **kìrìkìrì** nga dum — ma ndị ọcha, ma ndị ojii.

N'ogologo **ikpere mmiri** dum, ọrụ nahụ agakwa n'ike, n'ike ndị na-ebupụta ngwongwo dị iche iche ụgbọ buru bịa; ndị na-akwanyèghàchị ibu ndị a ga-èzipụ̀ **òfèsì.** Mgbe mụ na nwanne m chọpụtara ebe ibu anyị dị anyị gàrà n'ụlọ ọrụ ndị 'Customs and Excise', wee kwụọ ụgwọ taksị maka ngwa ahịa anyị, ma natakwa **akwụkwọ ikikere** anyị ji ebupụ ya na wọọfụ.

Ma, isi n'ọdụ ụgbọ mmiri buru ihe pụọ adịghị òfelè. Si n'ebe a ruo n'ebe a, ndị uwe ojii, si n'ebe a, ruo n'ebe a, ndị soja, n'echefụghịkwa ndị Kọstọm. Ha dum ga na-enyocha ibu gị, ma na-atụle ma akwụkwọ ndị i ji gbapụta ya ha **zùkwàrà òkè.** Dị ka anyị siri ghọta, oke **m̀pụ** na-eme n'ọdụ ụgbọ mmiri. Ọtụtụ mmadụ na-ejiri **akwụkwọ ụgha** bịa bunarị ibu ibe ha; ndị ọzọ bụ ndị na-ebubata **ahịa iwū,** ma ọ bụ ndị na-agbanarị ịkwụ taksị maka ibu ha. Ọrụ ndị nnyocha a, bụzị ịhụ na **aka kpaara** ndị dum nà-àgba **àkụ̀ na ùba** ala anyị **m̀gba òkpuru.**

Oge anyị jiri nwee ike pụta na wọọfụ, ike agwụla m; obere anya ajụ na-ebu m maka **nkwògharị** dum nọ na wọọfụ; ma obi tọrọ m ụtọ na ejirila m anya m hụ nnukwu ọdụ̀ ụgbọ mmiri ahụ, ya na ihe dum na-aga n'ime ya.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
| --- | --- |
| ọdụ̀ ụgbọ mmirī | |
| ìjerè | |
| ngwa ahịā | |
| tùrù | |
| kpọ̀rọ̀ n'ùbu | |
| mwe mwe ọsọ̄ | |
| àkpà ọgọ̀m̀àbaala | |
| n'ose | |
| sìwèrè | |
| ụgbọ efèrè | |
| nà-èsè | |
| òshìmìrì | |
| òmìmì | |
| ezu | |
| ụgbọ njìn | |
| na-àba kìrìkìrì | |
| ikpere mmiri | |
| òfèsi | |
| akwụkwọ ikikere | |
| zùkwàrà òkè | |
| m̀pụ | |
| akwụkwọ ụghā | |
| ahịa īwu | |
| aka kpààrà | |
| àkụ̀ na ụ̀ba | |
| m̀gba ōkpurù | |
| nkwògharị | |
| àmàrà | |



## 6D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 6E Ajụjụ mmụghari

1 Kedụ aha nke na-agaghị adaba n'aha abụ a?
a) Mmadụ niile.
b) Ụnụ ncha.
ch) Ọha na Eze.
d) Ụnụ Dum.

2 Ajọ ọkọchị ahụ kọrọ
a) afọ asaa
b) afọ asaa na ọnwa asaa
ch) ọnwa asaa
d) obere ihe n'afọ asaa.

3 'Agụụ na-aghụpụ ụmụ anụ anya' pụtara na:
a) ha enwekwaghị anya
b) anya ha pịara apịa
ch) agụụ mesiri ha ike
d) agụụ ghụpụchara ha anya.

4 Chineke kpọrọ ụmụ anụmanụ ụta: 'ụta' bụ:
a) mkpezị
b) ọgbakọ
ch) ikpe
d) oriri na ọṅụṅụ.

5 Mgbakwụnye dị ụzọ:
a) atọ
b) otu
ch) anọ
d) abụọ

6 E ji egosị ahịrịnjụ
a) a-/e-
b) -ri/-ru
ch) -ghị
d) mba.

7 Nsonaazụ na-egosị ahịrị ntimiwu nkwe bụ
a) -i/-ị
b) -o/-ọ
ch) -a/-e
d) -u/-ụ.

8 Ahịrịnjụ niile na-ewe
a) nnọneetiti
b) nnyemaka ngwaa
ch) nsonaazụ -a/-e
d) nganiihu a-/e-.

9 Depụta ngwaa anọ na ntimiwu ha n'olu gị
a)
b)
ch)
d)

10 Kedụ nke na-abụghị ezi okwu n'ime ndị a?
Nkenụụdị ngwaa ndị a bụ:
a) nnyemaka ngwaa na ngwaa ntimiwu
b) ngwaa keọnọdụ na ngwaa mmume
ch) ngwaa mmume na nnyemaka ngwaa
d) ngwaa nkwe na ngwaa njù.

11 Wọọfụ na-ekpo ọkụ n'ihi na:
a) ngwa ahịa si Ala Bekee na-abata na ya
b) ndị mmadụ ji mwemwe ọsọ
ch) ndị mmadụ na-akwa trọkụ
d) ọtụtụ mmadụ na-abịa ebe ahụ maka ihe dị iche iche.

12 'Akpọrọ m n'ubu' pụtara na
a) ihe m hụrụ tụrụ m n'anya
b) ubu m kpọrọ nkụ
ch) ebuliri m ubu m elu
d) ubu m kpọrọ akpọ.

13 Olee nke na-adabaghị?
a) Ọtụtụ ụgbọ mmiri na-esiwe na wọọfụ.
b) Wọọfụ na-ekwo ekwo.
ch) Onye dere edemede a na-agabu na wọọfụ.
d) Naanị (a) and (b) bụ ezi okwu.

14 Olee nke bụ ezi okwu?
a) Ụgbọ efere ka ụgbọ mmiri ebu ibu.
b) Onye dere edemede a ahụtụla ụgbọ mmiri ugboro ugboro na mbụ.
ch) Ụgbọ efere nwere ụgbọ njin e ji akwọ ha.
d) Mmadụ ga-akwụrịrị ụgwọ taksị n'ụlọ ọrụ ndị 'Customs and Excise' ma natakwuo akwụkwọ ikikere iji bupụta ya.



15 Mbupụta ngwa ahịa na wọọfụ ...
a) na-esikarị ike n'oge abalị
b) na-esikarị mbuga ngwa ahịa ala Bekee ike
ch) bụ ọrụ ndị na-akwa trọkụ
d) ọ dịghị nke dabara.

16 Olee nke bụ ezi okwu?
a) Ndị uwe ojii na-amụba mpụ.
b) Ndị soja na kọstọm bụ naanị ndị nche e nwere.
ch) Olee mpụ na-eme n'ọdụ ụgbọ mmiri.
d) Mmadụ niile na-eji akwụkwọ ụgha ebupụ ibu ha.

17 Olee nke dabara?
a) Ụfọdụ na-ebupụ ibu ha n'akwụghị ụgwọ taksị.
b) Ndị nnyocha na-ejide ndị na-azụ ahịa mmanụ nri.
ch) Ndị nnyocha na-ejide ndị na-azụ ahịa iwu machiri.
d) Ọ dịghị nke bụ ezi okwu.

18 Olee nke dabara?
a) Ọrụ ndị nnyocha ziri ezi.
b) Ndị ụwe ojii na-eri ngarị.
ch) Ndị sọja na-agbagbu ndị bu ahịa iwu.
d) Ndị kọstọm na-egwu wayo.

19 Nkwogharị dị na wọọfụ mere ka
a) Onye dere akụkọ a enwekwaghị ike ịpụta.
b) Ha pụtawara, zuo ike tupu ha alawa.
ch) Mkpu pụọ ya n'ọnụ.
d) Ike gwụchaa ya, obere ajụ ebuo ya.

20 N'ikpeazụ ...
a) Iwe were ya nke ọjọọ
b) O nwekwaraghị ike ịhụ ọdụ ụgbọ mmiri ọ na-arọbu nrọ ya
ch) nkwogharị dum kwụsịrị
d) Obi tọrọ ya ụtọ n'ihi na ọ hụla ọdụ ụgbọ mmiri.

## 7A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
A ga-ebu ụzọ gụpụta akụkọ a ka e siri depụta ya.

*UGOMMA*

Ugomma bụ aha otu ejije Godson Echebima dere. Akwụkwọ a pụtara ìhè n'afọ 1981. Ndị bipụtara ya bụ Evans (Brothers Nigeria) Publishers. Ha nọ n'Ibadan.

Ọtụtụ ihe dị n'ejije a. Mana ihe anyị chọrọ ịrụtụ aka n'ederede a bụ àgwà a kpọrọ Ugomma. Ọ bụ site n'Ugomma a ka ejije a siri nweta aha ya.

Ugomma na mbido ejije a bụ ezigbo nwata na-akpa agwa ọma. Mana mgbe ejije a gawara n'ihu o bidoro kpawa agwa ọjọọ. Nke a bidoro mgbe ọ pụwara ịrụzi akpụkpọ ụkwu ya, ọ na-aga ekwudo nwoke ahụ na-arụzi akpụkpọ ụkwụ. Aha nwoke ahụ bụ Obiọha. Ọ bụ Obiọha ahụ mesiri tụwa ya ime. Mana Obiọha ekweghị ịlụ ya maka na Ugomma bụ onye ụka Fada ebe ya bụ onye siemensị.

Ime a Ugomma dị mesiri gbasaa n'obodo niile. Ndị Lijiọnarị ndị otu a jiri ya mee akaje. Obodo niile jiri ya mewe akaje. Obiekwe, Okorie, Okorafọ, ndị a socha na ndị jiri ya me akaje. Akaje a emere ya abụghị naanị maka na ọ tụrụ ime mkpuke; ọ bụ na na mbụ ọ bụ otu na ndị e chere na-ejighị ụka ọ na-aka egwu egwu. Ọzọ kwa, onye tụwara ya ime bụ onye siemensị. Ọ dịla na mbụ jụ ịlụ Alọzie maka na Alọzie bụ onye siemensị. Mana ihe kasịzị njọ ha jiri were Ugomma mee akaje bụ na ọ bụ onye na-arụzi akpụkpọ ụkwụ, bụkwa onye siemensị tụwara ya ime. Ugomma were bụrụzịa ugo njọ maka na ugo mara mma rie awọ, mma ya arụọ.

Akụkọ a na-ekwu maka ihe ndị dị n'ejije. Ejije bụ otu nkenụụdị agụmagụ. N'ime ejije a na-esite n'ekwuaza ewepụta isiokwu akụkọ. Akụkọ dị n'ejije mana a naghị akọ ya ka akụkọ nkịtị. Ọ bụ site n'ihe ndị a na-ekwu na etu e siri kwuo ha ka akụkọ ejije si apụta ihe. Ọzọ kwa a na-enwe mmegharị ahụ n'ejije. Mmegharị ahụ na-enyekwa aka iwepụta isiokwu ejije. Akụkọ na abụ bụ ụdịrị agụmagụ e dere ka a gụọ agụọ. Ọ dighị etu a maka ejije. E dere ejije ka e mepụta n'ihu ọha na eze n'obom ma ọ bụ na nkwago. Nke a bụ ndịiche dị n'etiti ejije na ụdị agụmagụ ndị ọzọ.



**Ajụjụ nnwale**

1 Gaa chọpụta ihe ndị ọzọ dị mkpa maka *Ugomma.*
2 Depụta njirimara ejije anọ ị maara n'Igbo: y.b. aha ejije; onye dere ya, ndị bipụtara ya na afọ e jiri pụta.
3 Zipụta nke ọma ndịiche niile dị n'etiti ejije na abù.
4 Zipụta nke ọma ndịiche dị n'etiti ejije na abụ.
5 Aha a bara ejije a bụ *Ugomma,* ọ dabara adaba?
6 Aha a bara Ugomma n'onwe ya ọ dabara adaba?
7 Olee ihe ndị mere e jiri kpọọ Ugomma asị?
8 Ihe gbasara ụka onye na-aga, o kwesịrị igbochi alụmdi na nwunye.
9 Onye bụ Obiọha n'*Ugomma?*
10 Onye bụ Nọzie n'*Ugomma?*

# 7B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Nghọtasinụ̀ụ̀da**

Igbo nwere ọtụtụ mkpụrụokwu a na-esi n'ụda ha amata ihe ha pụtara ma ọ bụ ihe ha na-ekwu. Ihe a na-akpọ mkpụrụokwu ndị a bụ nghọtasinụ̀ụ̀da.

Nghọtasinụ̀ụ̀da bụ Igbo, Igbo abụrụ nghọtasinùùda n'ihi na Igbo na-eji ya enyere ngwaa aka n'ụzọ dị iche iche. Nke a kpatara nghọtasinụ̀ụ̀da ji na-esokarị ngwaa, oge ọ bụla ọ dị n'ahịrịokwu.

Ọmụma atụ:

1 Ọ kpọ ọkụ rịrara/rarara.
2 Ụkwụ ya jụkwa oyi gbàrịị
3 O gùzò kwem
4 Ọ na-atọ {bìrịbìrị. (Mbàise) / nìgịnìgị. (Nsụka)}
5 Anwụ nà-àcha (gbàdagbàda). (gbaa ).
6 Ọkụ ana-enwu (vaa)! (faa)!
7 Anya na-ebi ya ọkụ ramram.
8 Ọkụ ahụ ana-eke rịị/rịrịrị.
9 Àhụ nà-ème yā pòkòpòkò.
10 Àhụ yā nīīle nà-àkwọ mụrụmụrụ.
11 Lèe kà ọ nà-èje ijè chọm chòm.
12 Ì nùkwàrà ihe na-adà gbịm gbịm kem̀gbe ụtụtù?
13 Egbè ya kwùrù kakpìm̀.
14 E sìchàrà anụ ahụ̀ ọ̀ dịrị sùsùrùrù.

Ọmụma atụ ndị a na-egosi na nghọtasinùùda na-eso ngwaa otu aka ahụ; ya mere ụfọdụ mmadụ na-ewe ha ka nkwuwa.

Nke abụọ, ha dịcha n'ụdị dị iche iche dịka ihe ha na-enyere ngwaa aka ịkọwa:

i) ụfọdụ na-akọwa kọlọ ma ọ bụ ụcha ihe;
ii) ụfọdụ na-egosi ọgịgara ije mmadụ, ya bụ etu mmadụ si aga ije;
iii) ndị ọzọ na-akọwa ọdịdị ahụ mmadụ ma ọ bụ ihe - ihe buru ibu ma ọ bụ dị nkịrịnka ma ọ bụ ngalịnga.

O nweghị ọdịdị ma ọ bụ agwa na e nweghị ike iji nghọtasinụ̀ụ̀da kọwaa.

E lebamachaa anya n'ọmụma atụ ndị a, e nwere ike iche na nghọtasinùùda so na nkejiasụsụ nke anyị na-akpọ nkwuwa. Mana nke a abụchaghị ezi okwu n'ihi na nghọtasinụ̀ụ̀da na-akpa agwa dị ka mkpọaha:

1 a) Ọ na-eme nwayọọ.
b) Nwayọọ bụ ije.
2 a) Girigiri bụ ugwu eze.
b) Ọ na-ada girigiri.
3 a) Ofe a na-alọ dọọdọọ.
b) Dọọdọọ ofe a akarịchaala.
4 a) Ọ nọ̀ duu.
b) Duu ọ na-anọ na-emefu m obi.

Ihe ọzọ e jikwa ama nghọtasinụ̀ụ̀da bụ na ọ naghị ekwemacha nghọta; ya bu, ịkọwara onye ọzọ ihe ọ pụtara na-aratụ ahụ:

5 Ọ nà-ème bìrìbìrì.
6 Ọ na-eme warawara.

**Ajụjụ nnwale**

1 Kedụ nghọtasinụ̀ụ̀da nke kwesịrị ịdị n'ahịrị a:
Mmiri na-asụ ______
a) pìtìpìtì
b) fàà
ch) gem gem
d) pokopoko.

2 Ụbọchị taa dị ______
a) warawara
b) gem gem
ch) chọm chọm
d) dègùdègù

3 Ọ na-ele mmadụ anya ______ dị ka atụrụ
a) sìì
b) fèè
ch) koo.
d) kpoo.

4 Kedụ nke na-enweghị ike ịdị n'ahịrịokwu a:
Anya na-ebi ya ọkụ dị ka onye nụrụ mmaị.

a) ràm̀ ràm̀
b) vàm̀ vàm̀
ch) gàm̀ gàm̀
d) dìm̀ dìm̀

5 Ọ kụla anya ______ dị ka onye zuru ohi.

a) nwayọ̀ọ̀
b) gbùm̀
ch) dùm̀
d) kpùm

Site n'olu gị họpụta nghọtasinụ̀ụ̀da nke kwesịrị ịdị n'ahịrịokwu ndị a sojenụ:

6 Ijiriji na-alọ/akụ/ada ______
7 I lee anya, ụgbọ elu agha ana-efeghari ______
8 Ọ na-aga ______ dị ka ụkwụ anaghị eru ya ala.
9 Anya adabachaala ya ______ dị ka onye nwụmiri anwụmi.
10 Ị hụ̀kwàrà nà ebe ō bụlà èderela ______
11 Ka anyị meenụ ______ dị ka ndị kpa ahụ.
12 Ebe niile na-esi ______ ka a ga-asị na ihe rere.



# 7CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**
A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*EMUME IRI ỌNÀ*

N'iga n'ihu n'ọrụ ịchọpụta **omenaala** Igbo dị iche iche, **ndị nta akụkọ** nke **akwụkwọ ozi** 'Okooko' jere **mgba njụ** n'ụlọ inyom Ụlụmma Chidobere nke Obazụ Mbieri, onye gbarala afọ iri asaa na ụmā. Lee ka ajụjụ ọnụ ahụ siri gaa.

*Òkoòko:* Inyom Ụlụmma Chidobere, anyị na-ekele gị, ma na-ekwupụtakwa **ùgwù na nsọpụrụ** anyị nwere n'ebe ị nọ, nne ọma anyị.
*Inyom Chidobere:* Ndeewonụ, ụmụ m!
*Òkoòko:* Dị ka ị màárà, awọ anaghị agba ọsọ ehihie n'efu. Ije anyị bụ ịnụta n'ọnụ gị etu ndị Igbo si akwado nwa agbọghọ maka ịla be di ya.
*Inyom Chidobere:* Ije unu dị mma. **Emume** ndị Igbo na-eme tupu nwa agbọghọ laa n'ụlọ di ya bụ nke ndị ụfọdụ na-akpọ m̀gbèdé, ma ọ bụ ịra ofe; ma, n'ala anyị bụ Mbieri, a na-akpọ ya emume iri ọ̀nà, ma ọ bụ irī nta.
*Òkoòko:* Olee etu emume ahụ si aga?
*Inyom Chidobere:* Nwa agbọghọ a kwụcharala **ụgwọ isi** ya, ga-abanye n'ụlọ nna ya, wee nọrọ ihe ruru **otu ọnwa,** n'apụtaghị ezi. Naanị ndị ọ ga na-ahụ anya bụ ụmụ nwaanyị, ndị ga-abịa **na-adụ ya ọdụ̀,** na-akụzikwara ya **ìzù** banyere nlekọta ezi na ụlọ. Ma, a ga-ahọpụta ụmụ **m̀gbọtọ̀** ụfọdụ, ịga nọnyere nwa agbọghọ ahụ. Ọrụ ụmụ m̀gbọtò bụ ịhụ na o riri ezigbo nri, ma na-asapụ ahụ nke ọma. Ha ga na-ete ya **uhie, èlù akū,** na **ùde** ndị ọzọ, iji mee ka ahụ ya dị **pokopoko, na-akwọ mụrụmụrụ.**
*Òkoòko:* Na ngwụcha oge m̀gbèdè, a ga-akpọhepụ ụzọ ka di nwaada ahụ kpọrọ yā?
*Inyom Chidobere:* Onye kwuru? A ga-ebu ụzọ **kee** ya **ekike,** wee duru ya pụọ ahịa. Mana, ekike **oge gboo** abụghị nke uwe na akwà. Oge nke anyị, a ga-ede nwa agbọghọ ahụ **ùrì** na **edē àlà** n'ahụ dum, maa techaa ya uhie n'ukwu. Ọ ga-eyiri **mgbaji** ṇ'ukwù, nyarakwa **èsùrù** na ihe olu ndị ọzọ n'obi.
*Òkoòko:* Ị kpọrọ ahịa aha; ọ bụ ịga gonye nwaada ahụ ihe?
*Inyom Chidobere:* Ọ bụchaghị etu a. A ga-agụrụ egwu, wee na-

edughari nwa agbọghọ ahụ n'ahịa; ndị mmadụ ga **na-aja** ya **mma**, na-enyekwa ya onyinye dị iche iche. Mgbe e siri n'ahịa dughachi nwa agbọghọ ahụ n'ụlọ nna ya, ka di ya nweziri ike ịbịa kpọrọ ya.
*Ọkoọko:* Inyom Ụlụmma Chidobere, ị **tụọla** anyị **mmanụ na ntị** taa; Obi ụtọ ka anyị ga-eji bipụta ihe gbasara emume iri ọna n'akwụkwọ ozi anyị. Nọrọ nke ọma.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.


| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| omenaala | |
| ndị nta akụkọ | |
| akwụkwọ ozi | |
| mgba njū | |
| ùgwu | |
| nsọpụ̀rụ | |
| emume | |
| otu ọnwa | |
| na-adụ̀ ... ọdụ̀ | |
| ìzù | |
| ụmụ m̄gbọtọ̀ | |
| uhie | |
| èlù akū | |
| ùde | |
| pòkòpòkò | |
| na-akwọ mụrụmụrụ | |
| kee ... ekike | |
| ogè gboo | |
| ùrì | |
| edē àlà | |
| mgbaji | |
| èsùrù | |
| na-àja ... mmā | |
| ịtụ ... mmanụ na ntị | |



## 7D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 7E Ajụjụ mmụgharị

1 Ugomma bụ aha akwụkwọ ma bụrụkwa aha otu ___ nọ n'ejije
   a) agwa
   b) akparamagwa
   ch) nkebi
   d) nhazi.

2 Ugomma bụ ezigbo nwata n'ihi na
   a) ọ mara mma
   b) ọ bụ Ugo
   ch) ọ na-akpa agwa ọma
   d) ọ bụ onye otu Lịjịọnarị.

3 Ugomma abụrụla ugo mara mma riri awọ maka na
   a) ọ lụghị Alọzie
   b) ọ jụrụ ịlụ ndị siemensị
   ch) ndị obodo ya mere ya akaje
   d) ọ tụụrụ ime ọkwa.

4 Kedụ nke na-abụghị nkenụụdị agumagụ?
   a) abụ
   b) akụkọ
   ch) obom
   d) ejije.

5 Olee kọmpịnị na-anaghị ebipụta akwụkwọ?
   a) Evans
   b) Longman
   ch) UPL
   d) UAC

6 Kedụ nke bụ ezi okwu?
   a) ndị Longman bipụtara *Omenukọ*
   b) ndị Evans bipụtara *Ụwadịegwu*
   ch) ndị UPL (Oxford) bipụtara *Isi Akwu Dara n'Ala*
   d) ndị Macmillan bipụtara *Nza na Obu*

7 Mmiri sụrụ ___ taa n'Opi
   a) fụụ
   b) waa
   ch) pịtịpịtị
   d) kporoo.

8 Ụbọchị nke taa dị nnọọ ____
 a) pokopoko
 b) degudegu
 ch) chim chim
 d) fakịrịfakịrị

9 Nwaanyị ahụ na-ele anya ____ ka ehi
 a) siì
 b) sıı̄
 ch) yọm
 d) warawara

10 Onye ahụ kụrụ ____ dị ka onye ohi
 a) jìì
 b) gbùm̀
 ch) zàà
 d) vàà

11 N'emume iri ọna
 a) ọna ndị ukwu ka a na-esi
 b) ọna ndị nta na-aka ụtọ
 ch) ọna ojii ka a na-eri
 d) ọ dịghị nke ọ bụ.

12 Ịgba njụ pụtara
 a) ite ọgwụ n'ahụ
 b) ịga ozi
 ch) arịrịọ
 d) ịjụ ajụjụ

13 Kedụ aha nke dachapụrụ adachapụ?
 a) ịla nta
 b) m̀gbèdè
 ch) ịra ofe
 d) iri ọna.

14 Ịkwụ ụgwọ isi nwaanyị pụtara
 a) ime ego maka ọlụlụ ya
 b) ịzụ isi ya
 ch) ịkwụ ụgwọ maka isi ya
 d) ọ dịghị nke ọ bụ.

15 Kedụ nke a naghị ete ete n'ahụ?
 a) uri na ede ala
 b) uhie na òdò
 ch) ùdé na èlù
 d) mmanụ na oguru.



16 Kedụ nke na-adabaghị n'ejiji ndị gboo?
 a) eleganza
 b) mgbaji
 ch) esuru
 d) olomgbo.

17 Kedụ nke ịpụ ahịa na-adịghị na ya?
 a) m̀gbèdè
 b) ọmụgwọ
 ch) ịchọ ḿma
 d) òkwùkwù.

18 'Ịtụ mmanụ na ntị' n'akụkọ a pụtara
 a) ịkọrọ anyị ihe anyị chọrọ
 b) ịtụnye mmanụ n'ime ntị
 ch) ịtụsa mmanụ na ntị
 d) igere akụkọ.

19 Olee nke bụ ezi okwu?
 a) Ekike a na-eke n'emume iri ọna agbanweghị ruo taa.
 b) Iri ọna bụ mmemme maka ụmụ agbọghọ bi na be di ha
 ch) Inyom Chidobere emebeghị mmemme a.
 d) Ọ dịghị nke bụ ezi okwu.

20 Na ngwụcha ncheghari uche a, Okooko
 a) aghọtaghị ihe bụ iri ọna
 b) tere mmanụ na ntị
 ch) nwere afọ ojuju na nkọwa Chidobere
 d) jụrụ ịla be ya.

## 8A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụọ akụkọ a dị ka e siri dee ya.

*ṄRỈ*

Okwu a bụ 'Nri' nwere mpụtara hiri nne dị ka omenaala na ewumewu na akụkọala siri kwuo.

Nke mbụ bụ na Nri bụ aha mmadụ. Nri bụ aha ọkpụ nna nna ndị Nri niile. Nri bụ nwa Eri. Eri n'onwe ya siri n'elu wee bịa n'ụwa a. Ebe mbụ ọ pụtara bụ n'Agụleri. Ebe a ka ụmụ Eri siri wasawa. Ogbodudu gara Amanuke; Onugu agaa Igboarịam; Onojo agaa Igala, Iguedo agaa Ụmụleri, Nando, Akụzụ, Nteje na, ikekwa, Nsugbe. Nri n'onwe ya hapụrụ Agụleri wee ruo Amanuke wee mesịa gbadawa n'ebe Enugwu-Ukwu dị ruo taa. N'Enugwu-Ukwu Nri mụrụ onye mụtara Enugwu-Ukwu, Neọfịa na Enugwu-Agịdị. Nri mechara hapụkwa Enugwu-Ukwu gbadaa wee ruo ebe Agụukwu dị ugbu a. N'Agụukwu ka onye a, ezigbo aha ya bụ Ifekụanum, chiri echiche a kpọrọ *Nri* wee bụrụzịa Eze Nri nke Agụukwu.

Akụkọ kọkwara na Nri Ifikuanịm chịkwaara obodo ndị ọzọ dị ka Enugwu-Ukwu, Neọfịa, Enugwu-Agịdị, Nimo, Nibo, Nise na Agụlụ. O nyere ndị Nri ikike ime ka ndị mmadụ chie ọzọ. Ọ bụkwa ya mekwara ka e wuo ọtụtụ ahịa tinyekwarị òkwù arụsị dị iche iche o nyere iwu ka ndị mmadụ na-ebi n'udo. N'ihi nke a ka o jiri wube arụ. Otu ihe ọzọ o mere bụ na o webatara na Nri ụfọdụ ụdị ji o si n'Agụleri weta. O mekwara ka ndị Agụukwu bido Ifejiọkụ. O wubekwara arụsị a kpọrọ Agbala Nri nke e kwetara na ọ na-eweta ahụ ike na agamniihu na ndị kwenyere na ya. E kwetara na Nri Ifikuanịm nweere ike imerụ ọrịa, ǹje na-ebute ọrịa. A sịkwara na o nwere ike ime nwaanyị àgà ọ tụọ ime ma ọ bụ mee ka azụmahịa na-aga n'ebe na ọ dịbughị.

Akụkọ na-ekwu na Nri Ifikuanịm siri n'aka nna ya bụ Eri nweta ike ndị a niile.

Nri Ifikuanịm mụrụ ọtụtụ ụmụ. Ụmụ ụmụ ha mụtakwuo ọtụtụ ụmụ ndị basaziri n'ala Igbo ugbu a. Taa, a ga-ahụ ụmụ Nri n'akụkụ Nsụka na Udi na Ọka na Abetete na Agụlụ na Adazị, Nnewi, Ihiala, Ọlụ. A ga-ahụkwa ụmụ Nri na Bendel Steeti n'Ute, Ụkwụànì, Ịlaà, Abàlà, Isele-Ukwu, Ìgbòụzò na Ọgwashị-Ukwu. N'ezie, Ọgwashị pụtara Ògwá Nri n'olu Igbo ọzọ!

Onye ọ bụla ga-agbalị kọpụta akụkọ a ka e siri kọọ ya. E mechaa onye ọ bụla ga-agbalị kọpụta akụkọ yiri ya, ọ masị ya n'olumba ya. Akụkọ ahụ ga-akọriri maka obodo ma ọ bụ mba ọ maara siri nweta aha ya.

Ụdị akụkọ a ka a na-akpọ akụkọ àlà. Akụkọ àlà abụghị akụkọ ifo n'ihi na ihe ọ na-akọ maka ya bụ ihe mere eme n'oge gara aga. Ụfọdụ ihe ndị a na-ekwu maka ha n'akụkọ àlà na-adị ka ihe ndị a na-ahụ n'akụkọ ifo. Mana ihe ndị mgbagwoju anya ndị a bụ ihe ndị mere eme. Mana maka na ihe ndị a adịla anya ha jiri mee, ha bịa ha adị ka ifo dị iche n'akụkọ àlà na akụkọ ifo bụ na ndị na-akọ ha kwenyere na akụkọ ifo abụghị ezi okwu, mana akụkọ àlà bụ ezi okwu. Ndịiche ọzọ dị n'akụkọ àlà na n'akụkọ ifo bụ n'etu e si amalite akụkọ ifo. e ji 'chakpiii' ma ọ bụ oyiri ya amalite ịkọ akụkọ ifo. Ọ dịghị etu ahụ maka akụkọ àlà. Ọzọ kwa, agwa niile a ga-ahụ n'akụkọ àlà na-abụ mmadụ. Ọ bụghị etu ahụ maka akụkọ ifo bụ na ihe ọ bụla — anụmanụ, osisi, mmụọ — nwe ike bụrụ àgwà n'akụkọ ifo.

**Ajụjụ nnwale**

1 Otu na ndị a esoghị na njirimara Nri
   a) aha mmadụ
   b) aha mba
   ch) aha ndị
   d) aha arụsị.

2 A machaghị ma otu obodo na ndị ma ha bụ Nri
   a) Enugwu Agịdị
   b) Ogwashi-Ukwu
   ch) Nsugbe
   d) Ụkwuanị.

3 Ebe mbụ Nri siri mapụ njem ya bụ
   a) Eri
   b) Ụmụleri
   ch) Enugwu-Ukwu
   d) Agụleri.

4 Aha e jiri mara onye wuru Agụukwu bụ
   a) Ogbodudu
   b) Ọnọja
   ch) Ifikuanịm
   d) Enugwu-Ukwu.

5 Otu na ndị a esoghị n'echichi n'ala Igbo
   a) Nri
   b) Ọzọ
   ch) Duru
   d) Eri.

6 Otu n'ụmụ Nri ndị a ebighị na Bendel Steeti
   a) Ìgbòụzò
   b) Isele-Ukwu
   ch) Abàlà
   d) Ọlụ.

7 Abụọ na ndị a esoghị na njirimara akụkọ àlà
   a) mmalite pụrụ iche
   b) agwa ịbụ naanị mmadụ
   ch) agwa ịbụ mmadụ tinyekwara ndị ọzọ
   d) akụkọ ịbụ ezi okwu.

8 Akụkọ àlà na-akọ maka
   a) àlà naanị
   b) mmadụ na àlà naanị
   ch) mmadụ na àlà
   d) anụmanụ.

9 Ifikuanịm siri n'aka nweta ike ya
   a) Nri
   b) Eri
   ch) Agụleri
   d) Enugwu-Ukwu.

10 Otu n'obodo ndị a abụghị ụmụ Nri
   a) Agụleri
   b) Ute
   ch) Enugwu-Agịdị
   d) Ọnịcha.



## 8B Ụtọasụsụ na nsoroedide

### (A) Aha: Nkenụụdị

E nwere ike ikega àha Igbo n'usoro dị iche iche: nke mbụ bụ site n'ụdaolu nke ọ bụla nwere.

i) **Nkenụụdị n'usoro ụda:**

Nke a dị nnukwu mkpa n'ihi na ụdaolu aha ma ọ bụ nke ngwaa bụ isi sekpụ ntị n'ụtọasụsụ Igbo.

N'usoro nkenụụdị a, e nwere ụdịrị aha ndị a sojenụ:

| | |
|---|---|
| dí, jí | (E) |
| ísí, echi | (EE) |
| òrí, òké | (AE) |
| àlà, àkpà | (AA) |
| ụ́zọ̀, ụ́lọ̀ | (EA) |
| árū, ágū | (EN) |

Anyị lee anya n'atụ ndị a, anyị ga-ahụ na aha ndị a nwere otu ma ọ bụ nkeji abụọ; nke a apụtaghị na ọ bụ sọọsọ ụdịrị aha ndị a ka Igbo nwere.

Aha ndị nwere karịa nkeji abụọ dịkwa, ụfọdụ ha bụ ndị a:

| | |
|---|---|
| osisi | (EEE) |
| òsìsè | (AAA) |
| ngīga | (ENE) |
| mkpụrū | (EEN) |
| nzùkọ | (EAE) |
| nsùkpọ | (EAE) |

ii) **Nkenụụdị n'usoro ọdịdị mkpụrụokwu**

Ụdị nkenụụdị ọzọ kwa na-eso ọdịdị mkpụrụokwu, y.b. ụdị nke-jiokwu aha nwere.

Ọmụma atụ:

òriri, ọ̀tịta, òdìde.
nkwado, nkuzi,
agbọọ̄/agbọrọ̄, agụū/agụrū, ajō/ọjọọ̄
ọ̀kụ ǹgwọ̀, òje m̀bà, ògbu òpì
òri n̄ri, ọ̀kụ n̄kwụ
òriì, ọ̀zaà, òjee, ògbuù
ǹgwu jī, ǹtụ ọ̄nụ, ǹche māị

Aha ndị a sicha na ngwaa. Anyị ga-echeta na ọ bụ naanị ngwaa na-amụta mkpụrụokwu dị iche iche ndị ọzọ n'Igbo.

### (B) Nnọchiaha

E wezụga aha ndị a, Igbo nwekwara ụdịrị mkpọaha na-arụkwa ọrụ ebe

mkpọaha na-arụ. Ha ka anyị na-akpọ nnọchiaha; ha na-enwekwa ụdaolu nke ha n'ahịrịokwu.

Ha bụ ndị a:

| Mkpọọlu | | Ụbara |
|---|---|---|
| Mụ | m | ànyị |
| Gị | i/ị | ụnụ̀ |
| ya | o/ọ | ha |

Ọgbara nke abụọ bụ ndị ọrụ ha gwụchara n'ibido ahịrịokwu dị ka isiahịrị.

Ọmụma atụ:

Ahụrụ m ya n'anya.
M hụrụ ya n'anya.
I hụrụ ya n'anya.
Ọ hụrụ gị n'anya.

Anyị na-eji ụdaolu nnọchiaha amata ahịrị nke bụ ajụjụ n'ihi na ajụjụ Igbo niile nke azịza ya bụ eē ma ọ bụ mbà na-enwe nnọchiaha bu ụ̀dà̀là̀.

**Ajụjụ nnwale**

1 Depụta mkpụrụokwu ndị a n'olumba gị.

arū

agū

2 agụū

ọhụō

3 Kedụ isingwaa e siri mepụta mkpụrụokwu ndị a?

mkpụmkpụ

ǹgàǹgà

àyọ̀ràyọ

ègheèreghe

òtìto.

4 Depụta àhà ise na-esighị na ngwaa mepụta.

5 Ihe e jiri mara aha e si na ngwaa mepụta bụ na ha na-enwe

6 Nkenụụdị aha dị ka e siri depụta ya ebe a dị

a) otu
b) abụọ
ch) atọ
d) anọ.

7 N'ime nkenụụdị ndị a nke kacha mkpa bụ nkenụụdị n'usoro

a) ụdaolu
b) ọdịdị mkpụrụokwu
ch) nghọta ma ọ bụ mpụtara
d) nkebiokwu keaha.

8 Ihe kpatara ụdaolu jiri dị oke mkpa bụ na

a) ọ na-enye mkpụrụokwu ụda ya
b) ọ na-enyere anyị aka ịmụta nghọta ma ọ bụ mpụtara mkpụrụokwu
ch) ọ dị oke mkpa n'ụtọasụsụ Igbo
d) ọ naghị amasị ndị nkuzi.

9 Kedụ nke na-abụghị nkebiokwu na ndị a?

a) ndị nkuzi anyị.
b) ọtụtụ mmadụ.
ch) Igbo niile nọ ebe a.
d) ụmụ mmụọ.

10 Otu n'ime mkpụrụokwu ndị a esighị n'isingwaa

a) ahụhụ
b) Dike
ch) òtìtò
d) mbọmụzọ

## 8CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**
A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*ỌSỌNDỤ AGWỤ IKE*

**Ọgụ ugboro** tupụ Kàarachī na Ndụkwe agaa ịtụtụ ụdara, nna ha ochie, onye ha bịara **èzùmike** n'ụlọ ya, chètaarā ha na a naghị akpọ ụmụ ajọọ̄ anụ aha n'ime ọhịa—maka gị kpọọ ha, ha apụta zaa gị!

'Ewo! nnaa; **nsọ** ọhịa akarịzịela. Ọ̀ọkwa ị gwakwara anyị na a naghị arụ̀ **ihe a kụ̀rụ̀ àkụ** aka n'ubi?' Kaarachi jụwara etu a.

'Mba, nwa m; nke a ga-egbu ha. Gị chọọ igosi Ndụkwe ihe ndị na-epupụta, gị **kwukwụwa aka** wee gosi ya.'

'Nna a, ọ bù etu a?' Kaarachi kwụkwuru aka, wee bie Ndụkwe **ọ̀kpọ** n'isi. Ndụkwe tie mkpu, chụrụ ya pùwa.

N'ihu ubi, ụmụaka ahụ **sìrì òko** onye ga-ebu ụzọ tụtụjuo akpa ya. **N'igirigi** ọnwa ụtụtụ ahụ, ebe dum jụrụ oyi; o nweghị ndị ha na-anụ olu ha, karịakwa nnụnụ ụfọdụ. Kwa mgbe, kwa mgbe, ọhịa na-emetụ **ụǹàrà;** Kaarachi **ga-akụja,** ma Ndụkwe, onye obi siri ike karịa, ga-asị ya atụla egwu, na ọ bụ ụmụ **irighiri** anụmanụ na **ụ̀kpàrà,** ndị na-agara onwe ha. Ụmụaka ahụ atụtụjùwela akpa ha, oge mkpu pụrụ Kàarachi n'ọnū:

'Nne m o! Agwọ o!'

Ndụkwe tụgharịa n'ebe Kàarachi guzo, wee hụkwa otu nnukwute **ajụala** na-eji nụnụnụ ka o rulitere isi; anya ajụala ahụ nahụ **egbuke,** ebe ire ya na-akpụpụta, na-akpụbanye n'ọnụ ya. Ozigbo, ụmụaka ahụ tipụ ọsọ. Zam! agwọ ahụ mịpụ chụwa ha. N'akwa, na mkpụ, ụmụaka ahụ na-agba ka ụkwụ ha hà, ma agwọ ahụ na-achụsị ha ike. Oge Ndụkwe gbalara n'aka ekpe, agwọ ahụ chụrụzie sọ Kàarachi gawa.

'Agbala ogologo ogologo!' Ndụkwe gwàwàrà nwanne ya. Mgbe Kàarachi gbalara aka nri, agwọ ahụ gbatụ, kwụsị, rulite isi ya ọzọ. Ozigbo ọ hụtara ebe Kàarachi gbalara, ọ tụ̀ghàrịrị chụwa ya ọzọ. Ma ugbu a, ọ dịzị ka o ji iwe na-amịta zam! zam!, n'ike n'ike. Kaàrachi tisiwara mkpu ike oge agwọ ahụ na-erute ya nso.

'Gbalaa aka ekpe! gbalaa aka ekpe!' Olu Ndụkwe dàkwàrà òzọ. Ozigbo Kaàrachi **jụ̀nyèrè** n'aka ikpe, Ndụkwe **maa** otu **okpòrò** n'ihu ebe ajụala ahụ **nà-àzịzàje.** Agwọ ahụ wee chụrụ osisi ahụ gawa. Ụmụaka ahụ wee nwezie ohere gbapụ n'ime ọhịa, ma na-agba, na-agba, daga ha eruo n'ụlọ nna ha ochie. Mgbe ahụ ka Kaàrachi dapụrụ n'ala, **setịa, ụ̀fụ̀fụ̀** pụtawa ya n'ọnū.




Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| ọgụ ùgbòrò | |
| èzùmìke | |
| nsọ | |
| ihe a kùrù àkụ | |
| kwụkwùwa akā | |
| ọ̀kpọ | |
| sìrì òko | |
| igirigi | |
| ụǹàrà | |
| gà-àkụjà | |
| irighiri | |
| ụ̀kpàrà | |
| ajụàlà | |
| ègbuke | |
| jùnyèrè | |
| maa | |
| okpòrò | |
| nà-àzịzàje | |
| sètịa | |
| ụ̀fụ̀fụ̀ | |

## 8D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**
Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



# 8E Ajųjų mmųgharį

1 Akųkọ gbasara Ǹrì bụ
a) akụkọ ukwu
b) akụkọ àlà
ch) akụkọ ifo
d) akụkọ mmeje emeje.

2 E kwetara na Eri bụ nna
a) Ndị Igbo niile
b) Ndị Naịjirịa niile
ch) Ndị isi ojii niile
d) Ndị Anambra niile.

3 Ebe mbụ Ǹrì siri zọlie njem bụ
a) Ụmụleri
b) Eri
ch) Enugwu-Ukwu
d) Agụleri.

4 Otu obodo na ndị a esoghị n'ebe ụmụ Eri gara
a) Amanuke
b) Igala
ch) Obodo-Ukwu
d) Nando.

5 Kedụ nke na-abụghị agbara n'ala Igbo?
a) Agbala Nri
b) Igwekaala
ch) Ibini Ụkpabi
d) Ogun.

6 Kedụ nke na-esoghị na njirimara akụkọ àlà?
a) àgwà ịbụ naanị mmadụ
b) mmalite pụrụ iche
ch) akụkọ ịbụ ezi okwu
d) akụkọ isite na mgbe gboo.

7 Olee isingwa e siri na ha mepụta mkpụrụokwu ndị a?
a) arịrịọ
b) eghereghe
ch) ọkwụkwa
d) atụmatụ



8 Nkenụụdị aha dị ka e depụtara ebe a dị
a) abụọ
b) atọ
ch) anọ
d) otu.

9 Ihe kpatara ụdaolu jiri dị oke mkpa bụ na —
a) a na-akanye akara ya naanị n'elu ụdaume na myiriụdaume
b) ọ na-enye mkpụrụokwu ụda ya
ch) ọ dị oke mkpa n'ụtọasụsụ Igbo
d) ọ na-ara ahụ na mmụta.

10 Olee nke na-abụghị nkebiokwu na ndị a?
a) ọ bịara
b) ala anyị
ch) mmadụ dum
d) ndị gọvanọ niile.

11 'Ọsọ ndụ agwụ ike' bụ
a) akpaalaokwu
b) metafọ
ch) mmemmadụ
d) ilu.

12 Nna ha ochie gwara ha emela ọtụtụ ihe.
Ihe ndị a ka a na-akpọ
a) iwu obodo
b) omenaala Igbo
ch) nsọ ala
d) ọchịchị ọdịnaala.

13 'Ma ugbu a, ọ dịzị ka o ji iwe na-amịta zam! zam! n'ike n'ike'.
Zam! Zam! bụ
a) ike okwu
b) àkụkụ okwu
ch) nka okwu
d) atụmatụ okwu.

14 'Na-azịzaje' gosịrị na
a) agwọ ahụ ji oke ọsọ
b) agwọ ahụ na-aza ala
ch) agwọ ahụ na-aga ije n'ọkụ n'ọkụ
d) agwọ ahụ buliri isi ya elu.

15 A naghị akpọ ajọọ anụ aha n'ime ọhịa maka na...
a) onye ahụ ga-aghọ ajọ anụ
b) ha ga-anọ ebe ha nọ zaa ha
ch) mgbe ochie, ha nyeere mmadụ aka
d) ha ga-apụta zaa onye ahụ.

16 Mmadụ rụọ ihe a kụrụ n'ubi aka...
a) ọ ga-anwụrịrị
b) ọ ga-ebiji
ch) mmiri ga-ajụ izo
d) ọ dịghị nke ga-eme.

17 Olee nke bụ ezi okwu?
a) Ndụkwe hụrụ agwọ ahụ mbụ.
b) Kàarachi hụrụ ya mechie anya.
ch) Ha abụọ hụrụ ya otu mgbe.
d) Kàarachi hụrụ ya mbụ ma tie mkpu.

18 Olee nke na-adabaghị?
a) Obi sikarịrị Ndụkwe ike.
b) Ndụkwe gwara Kaàrachi ka ọ ghara ịtụ egwu.
ch) Kàarachi biri Ndụkwe ọkpọ.
d) Agwọ ha hụrụ bụ eke.

19 Kàarachi dara, setịa onwe ya n'ihi na:
a) agwọ ahụ tara ya
b) ọsọ ndụ agwụ ike
ch) ọ hụrụ nna ya
d) ọ ghakarịala ọsọ n'ike ọgwụgwụ.

20 Olee nke bụ ezi okwu?
a) Kàarachi maara ọsọ agwọ agba.
b) Ndụkwe ka Kàarachi mara ọsọ agwọ agba.
ch) Agwọ chụrụ Ndụkwe nnukwu ọsọ.
d) Nna ha ochie nwụrụ mgbe Kàarachi dara setịa onwe ya.





## 9A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụpụta akụkọ a, ka e siri dee ya.

*ỌKỤKỌ NTỊ IKE NA-ANỤ IHE N'ITE OFE*

N'otu mgbe e nwere otu nwa agbọghọ aha ya bụ Nkechi. Nkechi mara ezigbo mma. Ọ bụ ugo. Ihu ya na-egbu amụma dị ka akụ mmiri igwe. Eze dị ya n'ọnụ bụ ọla ọcha n'onwe ya. Ma a sị na ugo mara mma rie, awọ mma ya arụọ.

Nkechi si n'ụtụtụ na-eso ụmụ nwoke. Nne ya chọọ ikwu, Nkechi asị ya, 'unu bụ ndị agadị anaghị ahapụ ụmụaka ka ha zuoro unu ike'. Nkechi wee na-emezi ka o si sọ ya n'agbanyeghị ndị nwe ya. Mgbe Nkechi na-akwado ịba kọleji, nwanne ya nwoke kpọrọ ya iji nye ya ndụmọdụ. 'Nkechi, anụla m na o nweghị ihe na-enye gị obi añụrị karịa ịchụ ụmụ nwoke. Ma ugbu a ị na-aga ụlọ akwụkwọ ibi, ị mara asụ sụọ n'ikwe, ị maghị asụ sụọ n'ala. Ihe m ma bụ na ọ bụ ebe i jedebere ka m ga-azụdebe gị. Ogologo okwu adịghị ya.' Okwu ndị a niile siri n'otu ntị ya baa, sikwa na nke ọzọ pụọ. Nkechi lara ụlọ akwụkwọ na-eme etu masịrị ya. O bighị n'ụlọ akwụkwọ, ọ sịghị onye nkuzi na afọ na-arụ ya, ọ sị na isi na-awa ya ma ọ bụ na nne ya na-anwụ anwụ. E nye ya akwụkwọ, ọ pụọ jewe ebe dị ya mma. Oge ụfọdụ ndị enyi ya abịa were ụgbọ ala buru ya pụọ. Etu a ka Nkechi megidere. A dụọ ya ọdụ, ọ sị hapụ ya aka na ọ bụ aka dị onye mma ka o ji ehi isi. N'oge na-adịghị anya, nkata wee kpudo onye aghụghọ. O wee bụrụ ya na Nkechi atụọla ime. Onye isi ụlọ akwụkwọ wee kpọ ya sị ya na ọ ga-ala n'ihi na ụlọ akwụkwọ ya abụghị maka ndị dị ime.

Mgbe ọ nụrụ nke a, ọ chịrị aka bo n'isi tie oke mkpu sị na 'Ngozi, biko ị hụkwara na alaala m chim n'iyi. Ọ bụ ezi okwu na ijiji na-enweghị onye ndụmọdụ na-eso ozu ala n'ili. Ma ugbu a m nwere ndị ndụmọdụ ma soro ozu laa n'ili. Ọ bụ m ka ụta dịịrị.' Nkwụsị ọ kwụsịrị akwụkwọ abụghị naanị nsogbu dịịrị ya, kama na ndị ahụ niile ọ kpọrọ enyi ọma ya enweghịkwa nke na-echetakwa ya ọzọ. O nweghị nke kwere ịlụ ya. O wee nọrọ na be nna ya tawa ahụhụ o ji aka ya kotara onwe ya. O wee nọrọ na be nne ya na nna ya ghọọ nne nwaanyị mgbe ndị otu ya ka nọ n'ụlọ akwụkwọ.

Ụmụ agbọghọ kpacharanụ anya ụnụ matanụ na ụmụ okorọbịa dị ka udele. Udele adịghị ajụ ihe e jiri chụọ aja.
(Akụkọ a, dị n'Udoka' Mee 20, 1984).

Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụchaa akụkọ a nke ọma.

Akụkọ a abụghị akụkọ ifo. Ọ bụkwaghị akụkọ àlà. Ọ bụ akụkọ a rọrọ arọ. Ọ bụ Michael Okechi rọrọ akụkọ a, wee depụta ya, nye ya ndị 'Udoka' ha wee bipụta ya. I lezie anya n'isiokwu akụkọ a ị ga-ahụ na ọ gbadoro ụkwụ n'ihe ndị na-eme eme mgbe niile kọọ ya bụ akụkọ. Akụkọ ahụ tọrọ ụtọ ma nwekwa ihe ndị ọ na-akụzi. Otu ihe mere akụkọ a jiri tọọ ụtọ bụ asụsụ ǹkà e jiri chọọ akụkọ ahụ mma. Lee ilu ahụ e jiri mechie akụkọ a. Ọ dabara adaba n'isiokwu akụkọ a?

Akụkọ a rọrọ arọ nwere ike dị nkenke dị ka nke a. O nwekwara ike dịtụ ogologo dị ka ndị ahụ dị na *Dimkpa.* Ma ọ bụ o nwere ike ju otu akwụkwọ dị ka *Uru Nwa* ma ọ bụ *Jụọ Obinna* ma ọ bụ *Ọkpa Akụ Eri Eri.*

**Ajụjụ nnwale**

1 Olee ụdị mmadụ Nkechi bụ?
2 Chepụta ilu abụọ nwekwara ike ịbụ isiokwu akụkọ a?
3 Zipụta njirimara atọ maka akụkọ a rọrọ arọ.
4 Họpụtachaa ma depụtachaa ilu niile dị n'akụkọ a.
5 Chọpụta ihe ndị i nwere ike maka *Dimkpa.*
6 Gịnị bụ *Jụọ Obinna?* Olee onye dere ya na ndị bipụtara ya?
7 Gịnị bụ *Ọkpa Akụ Eri Eri?* Olee onye dere na ndị bipụtara ya.
8 Chọpụta ma depụta akwụkwọ akụkọ a rọrọ arọ ise Tony Ubesie dere.
9 Chọpụta ma depụta akwụkwọ akụkọ a rọrọ arọ anọ J.U.T. Nzeakọ dere.
10 Gbalịa depụta otu akụkọ a rọrọ arọ isiokwu ya bụ: 'aka aja aja na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ.'



## 9B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Mkpọaha na ihe na-eso ya**

**Dị ka anyị kwurula mkpọaha nwere ike ịbụ nke ọ bụla n'ime ndị a:**

aha
nnọchiaha
nkebiahịrị kèahà
nkebiahịrị kènkọwa
nkebiokwu kènkọwa

Nke ọ bụla na ndị a nwere ike ịrụ ọrụ dị ka isiahịrị ma ọ bụ mmejuahịrị.
Ọmụma atụ:

1 Ogu bi ebe a. (aha)
2 Ha ga-abịa gboo. (nnọchiaha)
3 a) Anyị ma na ọ na-eme aka abụọ. (nkebiahịrị keaha isiokwu)
b) Na ọ na-ezu ohi were anya. (nkebiahịrị keaha mmeju)
4 Ihe ndị a niile ga-anwụcha. (nkebiokwu keaha)
5 a) Nwoke ahū zūru ohi emevọọla onwe ya. (nkebiahịrị kenkọwa)
(Ogu) zūru ohi ga-ata onwe ya ụta (aha)
(Ogū)

Site n'atụ ndị a anyị ga-achọpụta na ọ dị ụzọ abụọ e nwere ike iji kọwakwuo maka aha. Nke mbụ bụ site n'iji:

**A) Nkebiahịrị kèaha**

Nkebiahịrị keaha bụ ahịrị nke na-arụ ọrụ n'okpuru mkpọaha, o nwere ngwaa nke ya ebe nkebiokwu keaha enweghị ngwaa. Nke a bụ ndịiche dị n'etiti ha, mana ha na-arụ otu ụdị ọrụ.
Ọmụma atụ:

1 Ọ chọrọ Chike.
2 Ọ chọrọ ka Chike gaara ya ozi.
3 Ọ na-ajụ ma ha ga-abịa.
4 Ogu amaghị ma nwa ya dị nduụ.
5 Ogu amaghị na nwa ya dị ndụ.
6 Ọ bara mba sị ha kwapụ n'ụlọ ya.
7 Na ha zara oku a gosịrị na ha chọrọ udo.

Atụ ndị a niile gosịrị nkebiahịrị kèahà.

**B) Nkebiokwu keàhà**

Atụ ndị a na-esonụ na-egosi nkebiokwu kèahà.

8 Dike chọrọ ịga ahịa.
9 Ọ maghị igwu mmiri.
10 Nwunye ya amaghị nri esi/esi nri.

Ọmụma atụ ndị a gosiri mkpa ngwaa dị n'iji ahịriokwu kọwaa ihe. O gosịkwara ihe ọzọ y.b. na ahịriokwu na-arụ ọrụ n'okpuru aha na-eme ka aha ahụ ghọọ nkebiahịrị. Ọ bụrụ ahịrị nke na-akọwa aha, a kpọ ya nkebiahịrị kenkọwa, kpọkwanụ nke na-arụ ọrụ ka mkpọaha nkebiahịrị keaha. Ọ bụ n'ụzọ abụọ ndị a ka ha si gbanwe agwa nke aha.

**Ajụjụ nnwale**

Mkpụrụokwu a kara ihe n'okpuru n'ahịriokwu ndị a bụ:

1 Akwụkwọ na-ara aha. ____

2 Ndị nkuzi ebidola ịpịa ụmụaka ihe ____

N'ahịrị ndị a, nkebi ndị a kara ihe n'okpuru na-arụ ọrụ ka:

3 Anyị ka nọ n'oriri ____

4 Ihe a na-akpọ n'oriri bụ

5 Ụbe ndị ọma ka m chọrọ ____

6 Ụdịrị mkpọaha dị n'Igbo dị

a) abụọ ch) anọ
b) atọ d) ise

7 Nkebiokwu kenkọwa
- a) mkpụmkpụ
- b) enweghị ngwaa
- ch) na-arụ ọrụ ya.
- d) o nweghị nke bụ ezi okwu na ndị a.

8 Nnukwu ihe dị iche na nkebiahịrị na nkebiokwu bụ na:
- a) nkebiahịrị na-adị ogologo
- b) nkebiokwu na-adị mkpụmkpụ
- ch) nkebiokwu nwere ike ito ogologo na-aga.
- d) nkebiahịrị na-enwe ngwaa, ebe nkebiokwu anaghị enwe ngwaa.

9 Ihe a na-eji ama nkebiahịrị kenkọwa bụ
- a) ọ na-akọwa mkpọaha
- b) ọ na-enyere ngwaa aka
- ch) ụdaolu ya pụrụ iche
- d) ọ na-arụ ọrụ dị ka nkọwaàhà.

10 Kedụ nke bụ nkebiahịrị kenkọwa na ndị a?
- a) Mmadụ̀ bì ebe à.
- b) Mmadū bī ebe dị nnukwu.
- ch) Ehi ọcha ahụ̀ àgbafèela ọzọ.
- d) Ndị mmadụ abịazuola.



# 9CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa, a ga-elebanye anya na mkpụrụokwụ ndị lara iche na mbipụta ya.

*NWATA KWỌỌ AKA*

Ndị Igbo na-atụ ilu, na-asị na 'Nwata kwọọ aka, ya na ndị okenye erikọọ nri.'

**Okwū ọkpụ** a **pụtara** ihe na Satọdee gara aga mgbe ndị òtù klọọbụ sayensị nke Eze Technical College gara n'ụlọ gọvanọ steetị, iga nara ekele n'aka ya. Kemgbe izu ụka ndị otu ahụ jiri merie **n'ajụaza** sayensị nke ndị ụlọ redio mebere maka ndị ụlọ akwụkwọ sekọndịrị dum nọ n'ala anyị, o nwebeghị ụdị onyinye na ozi ekele ha na-enwetabeghị. Ma, leta òkù si n'aka gọvanọ steetị bịa bụzi nke tọkachara ha, ma na-eyikwa ha obere egwù.

N'ogige ụlọ gọvanọ, otu onye uwe ojii dubara ụmụ akwụkwọ ahụ, na onye nkụzi ha n'otu ime ụlọ ukwu magburu onwe ya, ma **na-ajụ mụrịị.** Foto onye isi ala, nakwa nke gọvanọ steeti ko n'ahụ aja, ebe a haziri ọtụtụ **ihe ọkpụ,** eserese na ihe ndị ọzọ e ji na-achọ ụlọ mma, na gburugburu ime ụlọ ahụ.

O teghị aka oge gọvanọ na kọmishọna na-ahụ maka Omenaala, Egwurugwu na Ndị Na-Eto Eto batara, tinyekwara **ndị nta akụkọ** na ndị na-ese foto, soro ha bata. Kọmịshọna malitere site n'ikwu ihe ọnụ ọ bụụrụ steeti na ụmụ akwụkwọ ha butere **iko nzere** n'ajụaza sayensị ahụ, nke ndị ụlọ akwụkwọ steeti dum nọ n'ala anyị soro wee **sọọ mpi** ya. N'okwu ekele nke ya, gọvanọ kwunworo na gọọmentị na-achị steeti ahụ ga **na-agbà** ndị **ntoroọbịa** dum **ume** n'ezi omume ọ bụla ha na-eme. N'iji **kwàdo okwu ya,** o kwuru na a ga-enye ụlọ akwụkwọ ahụ onyinye **ngwa laboretrị** sayensị nke ọnụ ego ya ruru **puku naịra iri;** na nke ha, ụmụ akwụkwọ butere iko nzere ahụ ga **na-agụzi akwụkwọ n'efu** na steeti ahụ. Ị na-ajụzi ajụ etu ihu siri bụrụ ụmụ akwụkwọ ahụ ọchị ọchị?

Mgbe obere nsogbu dapụtara bụ oge e bidoro **òriri na nkwari.** N'eleghị anya na **ǹrụrọ** na **ihe m̀kpa ọchị** gọvanọ na ndị okenye nọ ebe ahụ na-eme, **èbùbè** ebe ha nọ ekweghị ụmụaka ahụ **mesapụ ahụ.** Nke a gosipụtara oge a na-ebugharị nri na mmanya dị iche iche okirikiri. O nweghị nwata ihere kwere kuru nri etu soro ya. Ma, ị tàrà ụmụ **nwa òkpùrù** maka ihe ha **na-amaghị anya** ya? Ngwanụ, mgbe e butere **ụ̀gba** n'ihu gị, ị ga-ekuju efere, ka ị ga-ekuru naanị otu ngaji?

A biakwanụ n'anụ ọkụkọ, ị ga-atapịa ọkpụkpụ ya n'ihu gọvanọ, ka **ị ga-eme ya anaa?** Ma, n'aghanyeghị nsogbu ndị a, oke **afọ jụrụ ụmụaka** ahụ na nnabata a nabatara ha n'etiti ndị nnukwu mmadụ a. Mgbe gị na gọvanọ steeti kparịtara ụka, kwụrụ see foto, ụtara **gbakwaa ọkụ**!

Ugbu a gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkụzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
| --- | --- |
| okwu ọkpū | |
| pụ̀tàrà ìhè | |
| àjụàza | |
| na-àjụ mụ̀rịị | |
| ihe ọkpū | |
| ndị nta akụkọ | |
| ìko nzère | |
| sọọ mpi | |
| na-agbà ... ume | |
| ntoroọbịa | |
| ngwa labọretrị | |
| puku naịra iri | |
| na-agụzi ... n'efu | |
| òriri nà nkwarì | |
| nrụrọ | |
| mkpa ọchì | |
| èbùbè | |
| mesàpụ̀ ahū | |
| nwa òkpùrù | |
| na-amaghị anya ya | |
| me ... anaa? | |
| afọ jùrù | |
| gbakwaa ọkụ! | |



## 9D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 9E Ajụjụ mmụghari

1 'Ọkụkọ ntị ike na-anụ ihe n'ite ofe' bụ ilu e ji
 a) akọ ụmụ agbọghọ ọnụ
 b) adọ mmadụ aka na ntị
 ch) ariọ mmadụ aririọ
 d) abara ụmụaka mba.

2 Omume Nkechi na-egosị na ọ chọrọ
 a) ịdị uchu
 b) ịga n'ihu
 ch) ịgba mbọ
 d) ịla n'iyi

3 'Ọ sighị onye nkuzi na afọ na-arụ ya, ọ sị na isi na-awa ya ma ọ bụ na nne ya na-anwụ anwụ' gosịrị Nkechi dị ka onye:
 a) aghụghọ
 b) ihu abụọ
 ch) isi ike
 d) ntụ

4 Akụkọ Nkechi bụ akụkọ
 a) nkọcha
 b) nzikọ (nkuzi)
 ch) ụta
 d) ọmụma ikpe

5 Ụdị mkpọaha dị n'Igbo dị
 a) abụọ
 b) ise
 ch) atọ
 d) anọ

6 Olee nke e nwere nkebiahịrị kenkọwa n'ime ya na ndị a?
 a) Agụ bi ebe a.
 b) Agwọ bi n'ọnụ a dị nnukwu.
 ch) Ha abịzuolarị
 d) Ọkụkọ ojii ahụ efepụla.

7 Ihe e ji amata nkebiahịrị kenkọwa bụ na
 a) ọ na-akọwa mkpọaha
 b) ọ na-enyere ngwaa aka
 ch) ụdaolu ya pụrụ iche
 d) ọ na-arụ ọrụ dị ka nkọwaaha

8 Ndịiche dị n'etiti nkebiahịrị na nkebiokwu bụ na:
   a) nkebiahịrị na-eto ogologo
   b) nkebiokwu na-adị mkpirisi
   ch) nkebiokwu na-enwe mgbakwụnye
   d) nkebiahịrị na-enwe ngwaa mana nkebiokwu anaghị enwe ngwaa.

9 Aha ọzọ a na-akpọ 'ajụaza' bụ
   a) kwiiz
   b) ndọrọndọrọ okwu
   ch) mkparịta ụka
   d) nrụrịta ụka.

10 Nkebiokwu kenkọwa
   a) dị mkpụmkpụ
   b) enweghị ngwaa
   ch) na-arụ ọrụ ya
   d) na-arụ ọrụ nkọwaaha.

11 Ihe ọkpụ bụ ihe
   a) ọlọrọ ọhụụ
   b) omenaala
   ch) na-ewu ewu
   d) a kpụrụ akpụ.

12 'Ime ụlọ na-ajụ mụrịị' gosịrị na:
   a) ọ dị mụrịị
   b) ọ mara mma ile anya
   ch) ọ na-ajụ oke oyi
   d) o kpoghị ọkụ nke o ji ajụ oyi.

13 Puku naịra iri bụ:
   a) ₦10,000
   b) ₦10,000,000
   ch) ₦10,000,000
   d) ₦10.00.

14 Obere nsogbu dapụtara maka na:
   a) ha na-azọ onye ga-anọdewe gọvanọ
   b) ahụ erughị ha ala
   ch) ụmụaka ahụ zọwara nri na mmanya
   d) ụfọdụ kuuru otu ngaji ụgba ebe ndị ọzọ kujuru efere.

15 Oke afọ juru ụmụaka ahụ pụtara na
   a) ha riri nnukwu nri
   b) ha riri ma ṅụọkwa



   ch) Obị dị ha ụtọ
   d) afọ juru ha bụ nke oke ya.

16 Ndị mebere ajụaza ahụ maka ndị sekọndịrị nọ n'ala anyị
   a) soja
   b) redio
   ch) nuzpepa
   d) ogwu aja

17 dubara ụmụ akwụkwọ ahụ n'ogige ụlọ gọvanọ
   a) onye kọstọm
   b) onye uwe ojii
   ch) onye soja
   d) onye agha ụgbọ elu.

18 Gọvanọ kwadoro nkwa o kwere inyere ndị ntoroọbịa aka site n'inye
   a) otu puku naịra
   b) puku naịra iri na otu
   ch) puku naịra iri atọ
   d) puku naịra iri.

19 Ụmụ akwụkwọ ahụ emesapụghị ahụ n'ihi na ...
   a) ha erijuola afọ
   b) mmanya na-egbu ha
   ch) ndị nọ ebe ahụ na-atụ ha egwu
   d) ihe na-atọ ha.

20 Afọ juru ha n'ihi na ...
   a) ha ahụtụbeghị gọvanọ mbụ
   b) onye nkuzi ha so ha jee
   ch) onye uwe ojii kelere ha
   d) e nyere ha nnabata dị ugwu.

## 10A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụpụta abụ a ka e siri dee ya.

*IHE NDỊ NÀ-ÈME*

Ihe ndị nà-ème
Kà èkwe nà-àkpọ hā;
Ndị nā-akpa èkètè
Ha nà ọhịa ekwerē;
Ndị nā-akpa ǹkàtà
Ha nà ọhịa ụ̀gà
Ọ̀fọ kà idìde
Ji àwa àlà
Ṁmiri bụ̀ ndụ̀ azụ̀
À naghị̄ èjide àkpà
Ṁakà anụ ogologo;
Gbuo agwọ̄ chịrị n'aka;
Ṅke ōke dịrị ōke,
Ṅke ǹgwèrè dịrị ǹgwèrè;
Òke esokwala ǹgwèrè
Maa mmīri,
Ọ kọchaa ǹgwèrè
Ọ̀ gaghị̄ àkọcha ōke;
Mgbàdà nyụọ kà edī,
Ikè ebìwaa yā;
Màkà nà anụ̀nụ̀ isi akāghị āka
Anāghị èje ọgū òtùtùkpọkpọ.

Site n'aka Nnabuenyi Ugonna: (*Abụ na Egwuregwu Ọdịnala Igbo*)

Onye ọ bụla ga-agba mbọ gụpụta abụ a ka e siri dee ya.

Anyị chebaara abụ a echiche anyị ga-achọpụta na isiokwu ya bụ na ihe e jiri mara onye ka ọ na-eme. Ọzọ kwa, na ọ bụ ihe onye chọrọ ka ọ na-ahụ. Lee na onye na-akpa nkata ga-amarịrị ihe maka ụ̀gà, etu onye na-akpa ekete kwesịrị ịma maka ekwerē. Onye ji akpa maka anụ dị ogologo ekwesịghị igbucha agwọ chịrị ya n'aka. Etu ahụ ka ọ bụ na



onye ọ bụla kwesịrị ịmara onwe ya. N'ihi ya oke ekwesịghị iso ngwere maa mmiri maka na oke nwere ajị n'ahụ ya, mana ngwere enweghị.

**Ajụjụ nnwale**

1 Ilu dị n'abụ a dị
   a) iri abụọ na abụọ
   b) itoolu
   ch) iri na otu
   d) iri na atọ
   Gbalịa kọwaa ilu ndị a n'etu ha siri pụta ìhè n'abụ a.
2 Ihe ndị na-eme ka ekwe na-akpọ ha.
3 Ọfọ ka idide ji àwa ala.
4 Mmiri bụ ndụ azụ.
5 Mgbada nyụọ ka edi, ike ebiwaa ya.
6 Anụnụ isi akaghị aka anaghị eje ọgụ ọtụrụkpọkpọ.
7 Chepụta otu ilu yiri, 'mmiri bụ ndụ azụ'.
8 Chepụta otu ilu yiri, 'ihe ndị na-eme ka ekwe na-akpọ ha'.
9 Chepụta otu ilu yiri, 'a naghị ejide akpa maka anụ ogologo, gbuo agwọ chịrị n'aka'.
10 Chepụta otu ilu yiri, 'ndị na-akpa èkètè, ha na ọhịa ekwerē'.

## 10B Ụtọasụsụ na nsoroedide

### A) Ahịrī kèndàbe

Ahịrịokwu nke anyị ga-akọwa ugbu a bụ ndị gbadoro ụkwụ na nkebiokwu ọzọ, y.b. ha enweghị ike ịkwụrụ n'onwe ha.

Ọmụma atụ:

1 Obi nweburu ego.

Nke a bụ ahịrị kwụụrụ onwe ya. Ka o sina dị, e nwere ike gbakwụnye ya ahịrị ọzọ nke ga-eme ka o too ogologo.

Obi nweburu ego oge ọ dị n'okoroọbịa.

Nkebiahịrị nke nwēre akara n'okpuru bụ mwube na-akọwa oge ihe mere. Ọ bụ nkebiahịrị kenkwuwa, o nweghị ike ịkwụrụ onwe ya n'adabeghị n'ahịrị nke bu ya ụzò.

Nkebiahịrị kenkwụwa ndị ọzọ bụ ndị a:

2 Anyị zuru ya n'ụzọ ka anyị na-eje ahịa.
3 Ọ nwụrụ mgbe ana a tụghị anya ya.
4 Ọ na-ebe akwa oge ọ bụla nne ya pụwara.
5 Ọ bịara n'ihi na ọ hụrụ gị n'anya.

### B) Nkebiahịrị mbụrụna

1 a) Ọ bụrụ nà ọ bịa, ị kpọ m̄
b) Ọ bịa, kpọ m.
ch) Kpọm m ma ọ bịa.

2 a) Unu gaa n'oge, unu ga-enweta ya n'ụlọ.
b) Unu ga-enweta ya n'ụlọ ma unu gaa n'oge.

3 a) Agaara m agwa ya okwu ma m̀ hụ̀rụ̀ ya
b) A sị nà m hùrù ya agàara m agwa yā okwu.

### CH) Ahịrị kēñkọwa

Dị ka anyị rụtụrụ aka na mbụ, ahịrị kenkọwa na-akpa agwa dịka nkọwa aha. I lee anya n'ọmụma atụ ndị sojenụ, ị ga-ahụ ihe jikọtara ha abụọ:

1 Anyị na-achọ ewu ọcha.
2 Anyị na-achọ ewu dị ọcha.

N'ahịrị (1) anyị nwere nkebiokwu keaha — ewu ọcha y.b. m̀kpọàha na ǹkọwa; mana na (2) ihe anyị na-ahụ bụ nkebiahịrị kenkọwa — ewu dī ọcha. Ya bụ na n'oge ụfọdụ e nwere ike isi na nkebiahịrị kenkọwa nweta nkebiokwu keaha.

Ọmụma atụ ndị ọzọ

3 Nwoke ahụ dachiri ụzọ mechara bilite.
4 Ndị niile anụrị juru obi na-egosi ya n'agwa ha.



### Ajụjụ nnwale

1 Ka ọ na-eje ahịa bụ [illegible] ma ọ bụ [illegible] n'ihi na o nweghị ike ịkwụrụ n'onwe ya dịka ahịrịokwu.
2 A na-akpọ ụdịrị ahịrị ndabe [illegible]
3 Ahịrị kenkwuwa na-enyere [illegible] aka ịkọwa nghọta ma ọ bụ mpụtara.
4 Mejupụta ahịrịokwu a site n'itinye ahịrị ndabe nke dabara adaba.
5 Nwata ahụ kụjiri ụkwụ [illegible]
6 Ahịrị ndabe kenkọwa na-akọwa [illegible]
Tinye ahịrị kenkọwa kwesịrị ekwesị n'oghere ndị a.
7 Ọ chọrọ ịlụ nwaanyị [illegible]
8 Màma sị m̄ gote osikapa [illegible]
9 A sị na o nwere imi [illegible]
10 Agaara m eti ya ihe mà [illegible]
11 Ụdị ahịrịokwu ndị a bụ [illegible]
Bikó, mèe kà ọ kwụsị ibē akwa.
12 Ahịrị ndabe nke a bụ [illegible]

# 10CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**
A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*TOBI! NỌDỤ MMA!*

O nwebèghị ihe wutere ụmụ akwụkwọ Saint Agnes' Secondary School dị ka ọnwụ Tobi. Ụbọchị prifekt ha gwàrà ha na nkịta ahụ bụ Tobi anwụọla, oke irū uju dakwasịrị onye ọ bụla ọtụtụ mmadụ kwụ̀sịrị nri ha na-eri, mkpu kpọwa, **ụsụ̀ na-àma,** anya mmiri rùsisịwa n'ebe ụfọdụ.

**N'elekere anọ** nke ehihie, **dị ka e yìrì,** onye ọ bụla zùkọ̀tàrà n'azụ ụlọ ọgbakọ̀ skuul. O nweghị onye ọnụ okwu dị; **ùbu** dum **kpọhuru n'echìchè;** anya dum tụkwasị n'otu igbe ozu ntakịrị dọrọ ebe ahụ. A malitere site **n'ịkàrà** nkịta ahụ obere **ụkà.** N'olu akwa akwa ka ọtụtụ mmadụ ji na-abụ̀ **abụ̀,** ma na-azakwa **èkpere.** Ka a dọnyeziri igbe ahụ n'ili, ma na-akwado ikpōgide ya aja, otu nwata akwụkwọ bidoro gụwa **m̀bem** a:

Tobì, à sị na ị nọghịzị?
Enyi kacha enyi, a sị na ị **laala mmụọ?**
Nkịta nwere obi mmadụ, a sị na ị hapụla anyị?
**Ụ̀nàmụ̀nà** gị ruru anyị ntị
Tupụ anyị amara gị;
Ụbọchị e mepere ụlọ akwụkwọ a,
Ka a sị na a hụrụ gị;
Afọ ọma gị, na **ụ̀mà egwū**
mèrè kà anyị kweta
na ọ bụ Chineke zitèrè gị
Ịbīa mewa anyị obi ụtọọ.

Mà, ugbu a, ị làwàrà ebe i sìrì bịa,
Onye ka anyị nwèzìrì?
Onye ga na-agbaso anyị n'ama egwuregwu?
Mgbe anyị na-agba bọọlụ,
Onye ga **na-ègburu** anyị **ọdụ̀ nịnī nịnī?**
**Mgbe anyị meriri,**
**Onye ga na-àtụgwòro anyị olu?**
Mgbe anyị nà-àkwa àrịrị?

Ewo! Tobi, **ágwá** gị **àmagbuola anyị.**
O, Tobi, ọnwụ gburu gị **àgbawala anyị aka**
Tobi, nkịtā nwere obi mmadụ, làá n'udo



Tobi, enyi kacha enyi, nọdụ mma!

M̀bem a, akwụsịbeghị oge otu nwata nọ n'àzụ tiwàpùrù akwa. Ozigbo, olu akwā ndị ọzọ èsòta. 'Nne m o!, Nna m o! Tobi! Tobi', àna-àhịọ ebe niīle. Ọ bụ̀zị n'oke mkpu na obi irū ùju à kà e lìrì nwa nkịta ahụ. Ma, Tobi adīghị na nchefù — **obe** e jìrì **hùwa** ili ya amā, na ònyònyo ya a kpùpùtàrà ga na-echetara ụmụ akwụkwọ mgbe dum, maka enyi ha lara mmụọ.

Ugbu a, gbalịa kowachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| ihe wùtere | |
| irū uju | |
| ụsụ̀ na-àma | |
| n'elekere anọ̄ | |
| dị ka e yiri | |
| ùbu | |
| kpọhuru n'echìchè | |
| ịkà .... ụkà | |
| abụ̀ nà èkpere | |
| m̀bem | |
| laa mmụọ | |
| ụ̀nàmụ̀na | |
| ụ̀mà egwū | |
| na-ègburu ànyị ọdụ̀ | |
| na-àtụgwọ̀rọ̀ anyị olu | |
| na-àkwa àrịrị | |
| ágwá gị amagbuo-le anyị | |
| àgbawala anyị akā | |
| obe | |
| hùwa ... mmā | |
| onyonyoo ya a kpụpụtara | |

## 10D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 10E Ajụjụ mmụghari

1 E nwere ilu ____ n'abụ a

a) ịri abụọ na abụọ
b) itoolu
ch) iri na otu
d) iri.

2 Abụ a bụ abụ ____
a) ilu
b) akpaalaokwu
ch) akwa arịrị
d) nkọcha.

3 Kedụ ilu ya na nke a dakọtara? 'A naghị ejide akpa maka anụ ogologo; gbuo agwọ chịrị ya n'aka'
a) Agwọ otu onye hụrụ ghọrọ eke.
b) Anụ laa taa, echi bụ nta.
ch) Mmadụ agaghị enwe ǹkwà wee na-akwa nkwa n'obi.
d) Nkịta chịrị akpa, nsị agwụ n'ọhịa.

4 E ji aha ____ wee na-enye ụkabụilu
a) ọtụrụkpọkpọ
b) nkelu
ch) nza
d) agankwọ.

5 Nkebịahịrị mbụrụna na-egosị ihe:
a) merela eme
b) na-eme mgbe ahụ
ch) a ka ga-eme eme
d) emeghị eme.

6 Njirimara nkebiahịrị kenkwụwa bụ na:
a) ọ bụ nzuruoke n'onwe ya
b) ọ na-anọ n'isiahịrị
ch) ọ na-eto ogologo
d) ọ nweghị ike ịkwụru na nke onwe ya.

7 'Ọ chọrọ ịlu nwaanyị dị oji' bụ
a) ahịrị kenkọwa
b) ahịrị kenkwuwa
ch) ahịrịokwu
d) nkebiahịrị



8 A si na o nwere imi ____
a) ọ gaara akpọ anwụrụ
b) isi ya gaara adị egwu
ch) ọ gaara ama mma dị egwu
d) ọ gaara adị mma karịa ka ọ dị ugbu a.

9 'Ha gaara eti ya ihe ma a sị na ha hụrụ ya' bụ
a) mbụrụna
b) ahịrị kenkọwa
ch) ahịrịokwu mbụrụna
d) ahịrị kenkwuwa.

10 Nkebiahịrị kenkwụsa na-akọwapụta ____
a) oge
b) mgbe
ch) ụzọ
d) aha.

11 Mbem Tobi bụ
a) mbem akwa arịrị
b) mbem otito
ch) mbem ụgọlị
d) mbem nkịtị.

12 'Ịla mmụọ' bụ ụzọ e si ekwu na mmadụ
a) ahapụla ụwa a gawa ala mmụọ
b) agaala ala mmụọ
ch) nwụọ ọ gbagoo ala mmụọ
d) anwụọla.

13 Otu okwu ebe a egosịpụtaghị 'Ụnamụna'.
a) èwù
b) òwùwù
ch) ùdé
d) mkpọtụ.

14 'Igbu ọdụ nịnịnịnị' bụ
a) omenaala nkịta
b) ọnụma nkịta
ch) iri uju nkịta
d) ekele nkịta.

15 'Ịtụgworo mmadụ olu' na-egosị
a) akpọmụgwọ
b) ekele

ch) mmasị na ekele
d) igosị echiche abụọ.

16 '... agbawala anyị aka' na-akọwa na
a) e nweghịzị nke anyị ji
b) aka anyị tọgbọ chakoo
ch) a gbawara aka anyị agbawa
d) Tobi anwụọla, hapụ anyị

17 E jiri olu njụụ dee abụa ka ....
a) Tobi zaa ha
b) mbem a kwee ọgụgụ
ch) ka o metụta mmadụ na mmụọ
d) ka e gosị ajụjụ Tobi jụrụ na ndụ ya

18 A kpọrọ 'Tobi nkịta.' Nke a bụ
a) mbụrụ
b) myiri
ch) mmemmadụ
d) egbeokwu.

19 Ka mbem a sịrị dị, anyị ghọtara Tobi dị ka
a) nkịta
b) atụrụ
ch) ajọ mmadụ
d) obere nwa.

20 ... ga-eme ka nchefu Tobi ghara ịdị ofere
a) ụlọ a rụrụ n'ili ya
b) obe e gwunyere n'ili ya
ch) igbe e jiri lie ya
d) akwa a kwara.





## 11A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**

Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụọ agwụgwa ndị a ka e siri depụta ha.

Zi m
Asọghị nne egbu nwa — *Agụụ*

Zi m
Ihe na-apịa nwata ụtarị asọghị nne ya anya — *Agụụ*

Zi m
Ọgbà aka àrị ọjị — *Ahụhụ*

Zi m
Onye kuru mmiri rịa elu — *Akụ Bekee*

Zi m
Ònò n'igwē abara ala m̀ba — *Egbe igwe*

Zi m
Anụ bụ uru uru — *Ejula*

Zi m
Ihe bụ na e jewe ejewe o so n'azụ
A lawa alawa o so n'azụ — *Ikiri ụkwụ*

Zi m
Mmadụ abụọ na-aga ijè
Mmiri ana-ama otù
Ma ọ maghị nke ọzọ — *Nwaanyị di ime na nwa o bu n'afọ*

Zi m
Egbe na a naghị ahụ anya
Ma ya ana-ebu ọkụkọ mgbe niile — *Onwụ*

Zi m
Ngịga Chukwu kpara — *Afọ*

Zi m
Akwa Chukwu sụrụ ma ọ naghị akọ akọ — *Ire*

Zi m
Onye bi na mmiri
Ma were osisi na-asa ahụ — *Eze*

Zi m
Ogige Chukwu gbara

Zi m
Osisi gbụọ mgbụ nnụnụ na-ebe ya;
Osisi agbụghị mgbụ
Nnụnụ na-ebī ya:

*Eze*

*Ọgaranya nwụọ*
*ụzọ na-aga*
*n'ama ya;*
*Ọgaranya*
*anwụghị anwụ*
*ụzọ na-aga*
*n'ama ya.*

Onye ọ bụla ga-agbalị gụọ ma chebara ihe ndị a gụrụ echiche, ka e lee ma a ga-ahụ ihe na ya.

Dị ka e siri kwuo na mmalite isi akwụkwọ a, ihe ndị anyị mere ugbu a bụ agwụgwa. Agwụgwa bụ agụmagụ. Agwụgwa ọ bụla na-enwe nkeji abụọ: ajụjụ na ọsịsa. E lezie anya nke ọma chebara ajụjụ ọ bụla echiche bịa lezie anya n'ọsịsa ya, a ga-ahụ na ọ ga-enwerịrị ihe dị añaa jikọrọ ajụjụ ọ bụla na azịza ya. Lee: Ire bụ ihe bụ na mgbe niile o dere ede. Etu a ka ọ dị mmadụ ozigbo a mụrụ ya wee ruo n'ọnwụ ya. Ọ bụ nke a kpatara e ji sị na 'ọ bụ akwa Chukwu sara na-anaghị akọ akọ.'

Lee: Ihe e kwuru maka nwaanyị dị ime na nwa o bu n'afọ. Ha abụọ bụ mmadụ abụọ na-agakọrịta ije. Mana mmiri (na anwụ) na-ama otu, y.b. nne ya, mana ọ naghị ama nke ọzọ, y.b. nwa dị ya n'afọ.

**Ajụjụ nnwale**

1 Zipụta etu 'Ahụhụ' siri bụrụ ihe gba aka arị ọjì.
2 Kedụ etu 'Ikiri Ụkwụ' si eso n'azụ mgbe niile?
3 Ọ bụ gịnị kpatara na ma na ndụ ma n'ọnwụ ndị mmadụ na-aga ebe ọgaranya mgbe dum?
4 Gịnị kpatara e jiri sị na Akụ Bekee kuru mmiri rịa elu?
5 Zipụta ihe kpatara na ihe ndị e kwuru maka 'Agụụ' jiri bụrụ ezi okwu.
6 Zipụta ihe kpatara na ihe ndị e kwuru maka ọnwụ jiri bụrụ ezie?
7 Gịnị kpatara eze jiri biri na mmiri ma were osisi na-asa ahụ?
8 Gịnị kpatara 'Afọ' jiri bụrụ 'ngiga'?
9 Gịnị mere e jiri kpọọ 'Eze', 'ogige'?
10 Zipụta n'ụzọ abụọ ihe ndị kpatara na ihe e kwuru maka 'Ọnwụ' jiri bụrụ ezie.



## 11B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Ahịrịùkwù**

Anyị na-agbago, ụdị ahịrịokwu anyị ga na-eleba anya ana-adịwaga ike. Anyị nwere ahịrịmfe, bịa nwekwaa ahịrịùkwù. Ahịrịmfe nwere otu isiahịrị, otu ngwaa. O nwekwara ike inwe mmejuahịrị. Ma n'aka ọzọ, ahịrịùkwù ga-enwerịrị karịa etu a.

Ọmụma atụ:

1 Mgbe ha nọgidere chi ejie, ha ebido jụwa onwe ha ihe ha ga-eme.
2 N'ibe anyị na-ahụbeghị dọkịta, anyị ga-eche ya abata.
3 Tupụ ha añụchaa mmai, ndị jere ahịa ga-abatarịrị.
4 Kama esemokwu na-adapụta, ọ ga-adi mma nà anyị gee sọ ntị taa.
5 Ha nọgidere ruo mgbe onye nwe ụlọ jiri lọta n'udo.
6 N'oge gara aga, ndị nnukwu mmadụ nwēre ego nara agba ohù ndị nara efe ha n'ụzọ dị iche iche.
7 Ihe ndị a niile ka m ga-enye gị, ma ị daa n'ala sekpuoro m.
8 Kama m rijuo afọ dachie ụzọ, mụ agbara afọ ụlị.

Onye lebara anya n'ọmụma atụ ndị a ga-ahụ nnukwute ihe dị iche n'ahịrịmfe na ahịrịùkwù. Isiahịrị ole ha nwere, ngwaa dị ha n'ime. Ihe kpatara nke a bụ ọtụtụ ụmụ ahịrịokwu jìkọtara ọnụ mepụta otu ahịrịùkwù.

Nke ọzọ kwa, anyị ga-ahụ na ǹjìkọ na-adịkarị n'ahịrịùkwù, ma ọ bụ mkpọaha na-arụ ọrụ dị ka ǹjìkọ. Ụfọdụ n'ime mkpọaha na-arụ ọrụ ka ǹjìkọ bụ:

'oge', 'mgbe' na 'ebe'

Oge ụfọdụ isi ngwaa na-arụkwa ọrụ dị ka njikọ.

Ma ǹjìkọ ndị bụ ezigbo ya n'ọmụma atụ ndị a bụ tupụ, kamà, mà, màkà, kà.

Anyị achọbeghị ịtụcha ahịrịùkwù ebe a ugbu a; ihe ka dị mkpa bụ inye ọtụtụ ọmụma atụ ka ụmụ akwụkwọ mara ụdịrị ahịrị e nwere, ya na etu ahịrịmfe siri dị iche na nke ùkwù.

**Ajụjụ nnwale**

Tinye njikọ kwesịrị ekwesị ṇ'oghere dị n'ahịrịùkwù ndị a:

1 Anyị chegidere ndị a kpọrọ maka ịgba egwu ______ elekere anọ anyasị akụọ.
2 ______ mmadụ niile erichaa nri, e bupụtachaala mai na ihe ọ bụla e ji ele ha ọbịa.

3 Anyị ga-enye gị ezigbo ntaramahụhụ ____ ihe ọjọọ niile i mere.

4 ____ ha nà-èbido lewe gị anya nle abụọ, hapụrụ ha ewu ha ka ha gburu, kère.

5 Ọ dị mma ____ anyị nọdụ ebe a ruo oge moto ga-apụta.

6 Ha ga na-asọ onwe ha asọ ____ ha lụchara ọgụ, gbuo mma, gaa kọọtụ.

7 N'ederede, aha abụọ nwere ike ịrụ dị ka ǹjìkọ bụ:

____

____

8 Ahịrịmfe bụ ahịrị nwere sọ naanị ____ na

9 O nwekwara ike inwe ____ ma ya bụ ngwaa ketran-sitiivu.

10 Ma ahịrịukwu na-enwe karịa otu a n'ihi na otu ahịrịukwu nwere ike inwe ihe dị ka ụmụ obere ahịrị ____ karịa.



# 11CH Edemerede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usoro okwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*ONYE KWE CHI YA EKWE*

Na mbido afọ, oge otu nwatakịrị **tụtara aro** ka ndị klaasị mebe **akwụkwọ mgbasa ozi,** ụmụaka ibe ya chịwara ya ọchị, gwawa ya **okwu akaje.**

Oke **editọ**! Ọ dị ka njem nleta anyị jere n'ụlọ ọrụ ndị nuzpepa 'Udoka' ọ **banyela** gị n'**isi?** Olee ebe ị ga-esi nweta akwụkwọ, **igwe na-ebi akwụkwọ** na ego ị ga-eji zụọ **ngwa** ndị ọzọ?' Ma nwata ahụ, nke bụ onye **na-agba isi akwara,** welitere okwu ahụ ọzọ oge onye nkuzi ha batara. Onye nkuzi tòrò echiche ahụ, wee kwàdo ndị klaasị ka ha kparịta ụka maka ya. Ọ gakwara n'ihu ịgwa ha ụzọ ụfọdụ dị **ofere** ha nwere ike iji mebe akwụkwọ ozi ahụ. Site na mkparịta ụka ndị ahụ, ụmụ akwụkwọ (ndị ọzọ) bịara nabata echiche ahụ, nke mere na tupu izu ụka agaa, e nweela **nkwekọrịta** ụfọdụ ndị a:

a) klaasị ga-ebipụta akwụkwọ ozi **'Òkoòko'** ùgbòrò abụọ n'afọ;
b) na mbido, onye ọ bụla ga-atụ nwa obere ego a ga-eji zụta akwụkwọ, ma n'ọdịniihu, a ga-esi n'ego e repụtara na-azụ akwụkwọ na ngwa ndị ọzọ;
ch) a ga-ahọpụta **kọmitii ndekwa** na nhazi; ma, onye ọ bụla chọrọ, ga-atụta ihe a ga-ebipụta.

Okwu bụ ekwula ya ekwu. **Arụmarụ otu** a bịara **nụrụ** onye ọ bụla **ọkụ n'obi.** Onye ọ bụla mewa nke ọ **mara anya ya** ndị **na-akụpụta n'igwe,** ndị na-ese **eserese mkpa ọchị,** ndị na-emebe **ajụaza,** ndị **na-achụ nta akụkọ,** ndị na-anakọta **ọkwà,** dịrịgawa. Onye nkuzi klaasị so n'òtù ndị ndekwa, ebe prinsipal kwetara idere ha **nkenke akụkọ àlà** banyere ụlọ akwụkwọ ahụ.

A na-esi n'ihe ntà gafere n'ihe ukwu. Ụbọchị e wepụtara akwụkwọ ozi ahụ, ọ dị ka ụbọchị Ekeresimesi n'ụlọ akwụkwọ ahụ. Ndị klaasị ndị ọzọ nyere aka kwado **mmemme** ahụ, nke a kpọchara ndị obodo, ndị ụlọ ọrụ redio, na ndị nuzpepa, na ya. Bịa lee ka ihu bụ, ma ndị isi ụlọ akwụkwọ ma ndị nne na nna, ọchị ọchị, n'ihu ọrụ ọma ụmụ ha rụpụtara. Kedụkwanụ maka ụmụaka **kpara ǹkà** a? Onye n'ime ha ị bara n'obi, gị **ebute** ya **akpa nnu.** Ọ bụghị na ha echefuola nsogbu

dum chere ha ihu n'ọrụ ahụ, ma **urù** ya gafere **òsìsọ̄ọ̄** ọ bụla ha gbàrà. Asụsụ Igbo ha bụzi kpoo, ebe ịhụnaanya na ịdịnootu mụbawanyere n'etiti ha. Ma ihe na-enyekacha ha añụrị bụ ihu akwụkwọ ozi 'Okooko' ahụ, wee cheta na ọ bụ **aka ọrụ** ha. N'ezie, dị ka ndị Igbo na-ekwu, onye kwe chi ya ekwe.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa, onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| tùtàrà arò | |
| akwụkwọ mgbasa ozi | |
| okwu akaje | |
| editọ | |
| na-agba isi akwara | |
| òfèrè | |
| nkwekọrịta | |
| Ọ̀koòko | |
| kọmìtii ndekwa | |
| àrụmarụ òtù | |
| nụrụ ... ọkụ n'obì | |
| màárà anya yā | |
| na-akụpụta n'igwe | |
| eserese mkpa ọchị | |
| àjụàza | |
| na-achụ nta akụkọ | |
| ọkwà | |
| nkenke | |
| akụkọ àlà | |
| mmemme | |
| kpara ǹkà | |
| ebute ... àkpà nnū | |
| urù | |
| òsìsọō | |
| aka ọrū | |



## 11D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka,' abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 11E Ajụjụ mmụgharị

1 Agwụgwa dabara na ngalaba
a) ụtọasụsụ
b) nsoroedide
ch) omenaala
d) agụmagụ.

2 Agwụgwa nwere nkeji abụọ:
a) ajụjụ na ọsịsa
b) ọsịsa na ajụjụ
ch) nhazi na ọsịsa
d) ajụjụ na nhazi.

3 Gwam gwam gwam, gwa m agbọghọ ara anọ:
a) ụdara
b) nne na ada ya
ch) ikwe (odo)
d) oche nwere ụkwụ anọ.

4 Zim zim zim, zi m onwere uru enweghị ọkpụkpụ
a) ọkwụrụ
b) mbe
ch) ji
d) ejule.

5 Olee anụ na-eyi àkwá?
a) udele
b) átú
ch) ùfù
d) ṳ́sṳ́.

6 Ahịrịmfe nwere
a) naanị isiahịrị
b) ngwaa abụọ
ch) otu isiahịrị na ngwaa abụọ
d) otu isiahịrị na otu ngwaa.

7 Kedụ nke na-adabaghị n'ụtọasụsụ Igbo?
a) ahịrịike
b) ahịrịùkwù
ch) ahịrịnkwe
d) ahịrịntimiwu.

8 Njiko na-abatakarị ______
a) n'ahịrị kenkọwa
b) n'ahịrị kenkwụwa
ch) n'ahịrịmfe
d) n'ahịrịùkwù.

9 Tinye njikọ dabara adaba.
Anyị ga-enye ya ntaramahụhụ kwesịrị ekwesị ______ ihe ọjọọ niile o mere ndị ala anyị.
a) n'ihi na
b) maka
ch) maka na
d) n'ihi.

10 Anyị chegidere ndị a kpọrọ ịgba egwu ______ elekere anọ anọ anyasị akụọ
a) ruo
b) tupụ
ch) tutuu
d) telee.

11 'Oke editọ' ha kpọrọ ya pụtara na
a) ọ bụ ọchọ ihe ukwu na-anya agba enyi
b) ọ bụ editọ a ma ama
ch) ọ bụ editọ ukwu
d) ọ bụ editọ maara ọ́rụ ya.

12 Ha nyere akwụkwọ mgbasa ozi ha aha ọma bụ **Okooko.**
Okooko bụ nnụnụ
a) na-ekwu oke okwu
b) maara ihe nke, ukwuu
ch) na-agbasa ozi
d) na-akọpụta ihe nzuzo.

13 Kedụ nke na-esoghị n'ọrụ mgbasa ozi?
a) nuzpepa
b) redio
ch) tivii
d) nọvụl.

14 'Onye n'ime ha ị bara n'obi, gị ebute ya akpa nnu' pụtara na
a) onye ọ bụla n'ime ha bụ akpa nnu n'obi
b) n'ime obị ha, akpa nnu dọrọcha ya
ch) ị gaa n'obi ha, ị ga-enweta akpa nnu
d) aṅụrị jupụtara ha obi.



15 Olee nke na-adabaghị?
a) **Okooko** bụ aha akwụkwọ a ga-ebi ugboro abụọ kwa afọ
b) Prinsipal adọnyeghị ha ukwu
ch) A ga-ese eserese mkpa ọchị, mebe ajụaza, ma bipụta akụkọ nakwa ọkwa dị iche iche
d) Ụlọ akwụkwọ ahụ nwere ákụkọàlà.

16 Olee uru ha nwetara n'ime ndị a site n'ibi akwụkwọ ahụ:
a) ịmawanyere akwụkwọ
b) ịgafe n'ule WAEC
ch) inweta ọtụtụ ego
d) asụmiigbo ha ịbụ kpoo.

17 Kọmitii ndekwa ...
a) na-ebipụta ya bụ akwụkwọ
b) na-agbasara otu ahụ ozi
ch) na-ere okooko
d) na-edekwa ma na-ahazi okooko.

18 A kpọkuru ndị obodo nakwa ọha na eze ka ha:
a) bịa kirie ụlọ akwụkwọ ha
b) kirie ihe e sere n'**Okooko**
ch) soro ha nụọ mmanya
d) soro hụrụ mwepụta **Okooko.**

19 Olee nke na-adabaghị?
a) e wepụ nwata akwụkwọ tụpụtara aro a, **Okooko** agaraghị adị.
b) e wepụ nkwado onye nkuzi, **Okooko** agaraghị adị
ch) e wepụ nkwado ndị klaasị ọzọ **Okooko** agaraghị adị
d) **Okooko** mechara bụrụ ihe e mere mmemme maka ya.

20 Atụmatụ nwata akwụkwọ ahụ tụpụtara **Okooko** kwesịrị
a) nnomi
b) ịkpọ asị
ch) ịda nha
d) ịkwatu akwatu.

## 12A Agụmagụ

**Ndụmọdụ**
Onye ọ bụla ga-ejisi ike gụpụta akụkọ a ka e siri dee ya.

*ORU ỌWỀRẺ*

Anyị akọwaala ka Ọwèrè siri bido. Anyị rụtụkwara aka n'etiti oke esemokwu dapụtara n'etiti Ekwema na Ndụmụọha. N'ihi na Ndụmụọha chere na Ekwema megburu ya, o bidoro nwawa ka ọ ga-esi wepụ ndụ nwanne ya bụ Ekwema. Oge Ekwema nụrụ nke a o mere ngwa ngwa kwakọrọ pụọ n'abalị. Na njem ya, ọ kpọọrọ nwunye ya, nwa ya nwoke bụ Amatụ na nwanwa ya bụ Ikenaegbu. Ha siri Ụrata gafee Egbu bụ ebe Maazị Okeegbe si Ụmụọfọ n'Egbu na-alụ ada ya nwaanyị. Na njem a, o jicha ji, mmanụ, nri na ụgba. Ka o rutere Ụmụọfọ Egbu ọ gwara ọgọ ya nwoke maka uke na-achọ ikwukọ ya na ihe kpatara o jiri agba ọsọ ndụ. Ọgọ ya nwoke rịọrọ ya ka ọ nọrọ na nke ya n'abalị ahụ ma Ekwema jụwapụrụ isi ime nke ahụ. N'ikpeazụ Ekwema bilikwara ọzọ na njem ọsọ ndụ ahụ ọ na-agba. Ka ọ na-apụ o weere icheku ọkụ o jiri mere tọọchị maka ịhụ ụzọ.

O jidere ọkụ a tutu o rute n'otu ugwu dị n'ụzọ Egbu. Ebe a bụ ka ha nọrọ zuo ike. N'ihi ya, a ka na-akpọ ugwu ahụ 'Ugwu Ekwema' ruo taa. Ka ha richara ji ahụ mmiri bidoro gụwa ha. Ha were bido chọwa mmiri. Ekwema siri n'ebe ahụ ọ tụrụ ụlọ ya banyekwuo n'ime ọhịa ịchọ mmiri.

O mechara n'ikpeazụ chọta mmiri na-agba n'ala. O jiri aka ya baa mmiri ahụ 'Ogbuamụma' ma e mechara kpọwazie mmiri ahụ 'Ọtammiri Ọwèrè'.

Ka o hiwechara ụlọ ma zuokwa ike n'Ugwu Ekwema, o gburu ọdụ ya nke e jiri mara ya n'Ụrata. Nke a mere ndị be ha jiri bido chọwa ebe ahụ. Ụfọdụ ndị soro ya biri ebe ahụ bụ ụmụ okoroọbịa ahụ zuru oke nke ụfọdụ n'ime ha lụchara nwaanyị.

N'otu ụbọchị Ekwema na ndị ya nọ, ya jiri uche ya chọgharịa mgbapụ ya site n'Ụmụalụm. Ihe o kpebiri n'obi ya bụ na ikpe amaghị ya na ezi na ụlọ ya. Ya bụ na ihe ha mere bụ ihe ziri ezi. N'asụsụ Ọwèrè ha jụrụ onwe ha sị, 'O ru anyị?', wee zaghachi sị, 'O rughị anyị'. Nke a bụ mmalite emume a, a na-akpọ 'Oru Ọwèrè'. A na-eme emume a afọ



dum n'izu mbụ n'ọnwa Julaị. O nweghị nwaafọ Ọwèrè na-eji emume a bụ Oru Ọwèrè na-egwu egwu.

Akụkọ a bụ akụkọ ala. Ọ na-akọ maka ihe ndị mere eme. Ọ na-akọwa ha ihe ndị ahụ siri dị ire ruo taa: Ugwu Ekwema, Ọtammiri na Oru Ọwèrè. Akụkọ a na-akọwa maka omenaala. N'akụkọ nke a, a gwara anyị ka otu ọdịnaala ndị Ọwèrè a na-akpọ Oru Ọwèrè siri nweta aha ma sikwa malite.

Akụkọ a sịrị n'edemede abụọ dị n''Udoka.' Otu bụ nke Ihekwobiri Unegbu dere n'Udoka Mee 20, 1984, ọ kpọrọ 'Mmalite Oru Ọwèrè'. Nke ọzọ bụ nke Ụzọma Ebere dere n''Udoka' Julaị 29, 1984 ọ kpọrọ 'Oru Ọwèrè: Nnukwu Emume n'Ọwèrè'.

**Ajụjụ nnwale**

1 Akụkọ ala bụ akụkọ
   a) ifo
   b) a rọrọ arọ
   ch) omenaala
   d) ihe mere eme.

2 Mgbe Ekwema jiri pụọ njem ya bụ
   a) n'ụtụtụ
   b) n'abalị
   ch) n'oge na ọ maghị
   d) n'oge esemokwu.

3 Abụọ na ndị a esoghị Ekwema pụọ
   a) Ikenaegbu
   b) Amatụ
   ch) Maazị Okeegbe
   d) Ndụmụọha.

4 Ebe mbụ Ekwema nọrọ zuo ike, ma rụọ ụlọ bụ
   a) Egbu
   b) n'Ugwu Ekwema
   ch) Ụrata
   d) Ụmụọfọ.

5 Ihe Ekwema jiri mee ka a mata ebe ọ nọ bụ
   a) icheku ọkụ
   b) ọdụ
   ch) ụgba
   d) ndị be ya.

6 Ihe mbụ a gụrụ mmiri ahụ bụ
   a) Ọtammiri Ọ̀wèrè
   b) Ogbuamụma
   ch) Oru
   d) Nwaorie.

7 Mgbe e ji eme Oru Ọ̀wèrè bụ
   a) Julaị
   b) izu mbụ na Julaị
   ch) n'afọ ọhụrụ
   d) afọ dum.

8 Kọwaa ihe Oru Ọ̀wèrè pụtara.
9 Olee ihe kpatara ndị Ọ̀wèrè ji akpọ Oru ha nnukwu ihe?
10 Kọwapụta otu emume unu nwere n'obodo unu? Gịnị ka ọ pụtara n'omenaala ụnụ?

**Ajụjụ nnwale**

1 Nkwụsị ike bụ ụzọ a na-eji egosi ihe dị ______ n'ahịrị.
2 Etu e ji egosi nke a bụ site n'iwere ______ ahịrị mee ya ______
3 Ahịrị kenkwụsị ike nke ahịrịokwu a, 'I mere nnukwu ihe' bụ: ______
4 Ǹjịkọ na-adịkarị n'ụdị ahịrị a bụ ______
5 Usoro ọzọ a na-esi egosi mkparịta okwu bụ site n'ụdị ahịrị anyị na-akpọ ______
6 Ihe e ji ama ya bụ ______ na-ebido ya.
7 Ahịrị mbido a bụ ______ ma ọ bụ ______
8 Ya bụ ụdị ahịrịokwu nwekwara ike iji ______ ma ọ bụ ______ were bido.
9 Njirimara mkparịta okwu ọzọ bụ ______ ma ọ bụ ______
10 Ihe nke a pụtara bụ na ndị ahịrịokwu a, a na-eji ihe ______ ghọta nke na e kwughị ekwu.
   Kedụ nke bụ ahịrị kemkpabiri n'ime (i) na (ii)
11 i) Ị kwela nà m̀madụ̀ nà-àta ahụhụ?
   ii) Ekwela m.
12 a) Okwu yā jùrù m̀ afọ.
   b) Ọ bụkwa etu ọ dị m.



# 12B Ụtọasụsụ na nsoroedide

**Njirimara mkparịta ụka**

Mgbe mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa na-akparịta ụka, ụdị okwu ha na-ekwu na-egosi ọtụtụ ihe—ihe ndị na-akpa nkata ma-maka onwe ha, isiokwu ha, na ihe ha ma, maka gburugburu ha. Ọmụma ndị dị etù a na-egosi n'ụdị ahịrịokwu ha na-eji akpa ụka. Ndị a so n'ụfọdụ ahịrịokwu anyị ga-anụ na nkata mmadụ na ibe ya:

1 Ezigbo ego ka ahụ m chọrọ.
2 Ọ bụkwanụ arụ bụ ihe a.
3 Ogu ka m kpọrọ.
4 Ekweekwe ka ị bụ.
5 Ọ bụkwanụ egwu ụmụaka dị ihe a.

Ahịrịokwu ndị a nwere otu ihe zuru ha ọnụ—ha na-egosi nkwụsị ike, ha nwere otu ǹjịkọ. Nke ọ bụla n'ime ha nwere ụzọ ọzọ a ga-esi dee ya nke na-egosighị nkwụsị ikē dị ka:

Ahụ m chọrọ ezigbo ego, were gawazịa. Ya bụ na nkwụsị ike bụ otu njirimara mkparịta ụka mmadụ na ibe ya. Njirimara ọzọ kwa bụ ihe a na-akpọ ọ̀kọtọ̄ọkwu — ya bụ ụdị mwube toro ogologo e ji emebe ahịrịokwu.

Ọmụma atụ bụ ndị a:

1 Ọ dịghị ihe ọ bụla m kwuru.
2 O nweghị onye dara na klaasị anyị.
3 O nweghị ihe ha nwere ike ime.
   (o kwurula )
   (ọ na-ekwu)
4 Ọ dịghị ezi okwu (ọ ga-ekwu)
   (o kwuru. )
5 O nwere ihe o mere, kpatara o ji ezo ezo.

Ụdị asụsụ ọzọ a na-anụkwa na mkparịta okwu bụkwa ndị a:

1 Ike agwụla m.
   i) Ọ bụkwa etu ọ dị m.
   ii) Ma mụnwakwa.
2 Agà m̀ ègoro ya bū akwà.
   i) Mụnwa ga-egorokwa.
3 Ị ga-eri nri akpụ?
   i) Eé, agà m̀ èri.
4 Nwata a nọ etu a, ọ̀ dị gị ka ọ ga-ama akwụkwọ?
   i) Ọ ga-amacha.

5 Nwoke ahụ kpasuru m iwe.

i) Ma nwunye m kwa.

I lee anya n'ọsịsa ndị a, ị ga-ahụ na ahịrị ndị ahụ ezughị ezu, mana nke a anabeghị ezigbo nghọta ihe a na-ekwu maka ya. Ya bụ na ha nwechara nkebiokwu ndị a kpapụrụ n'ihi na a na-esi n'ihe e kwurula ekwu aghọta ha. N'ụtọasụsụ, a na-akpọ nke a mkpabìri ma ọ bụ nkwubìri, ya bụ, na ahịrị ndị a bụ ahịrị kèmkpabìri. N'ilu Igbo, ahịrị kèmkpabìri dị ka ụka a kpara akpa a na-eji isi ekwe.



## 12CH Ederede a họrọ ahọ

**Ndụmọdụ**

A ga-agụpụta ederede a ka a nụ ya nke ọma. E mechaa, a ga-elebanye anya na mkpụrụokwu na usorookwu ndị lara iche na mbipụta ha.

*'KPỌTỤBA' NA AKWA NDỊ ỌZỌ*

Onye chọ̄rọ ịchị ọchị kwèsìrì iga n'**ọdụ** ndị ahịa akwa. Gee ntị n'**aha** ụfọdụ **ha na-ètu** akwà: 'Volvo', 'Mercediz', 'Ọsọdieje', na **'Kpọtụba'**. Oke aha ndị a bụ ihe ndị **ùghàlàmà** akwa jị **aghòrị** ndị nwaanyị ka ha na-azụ ha ahịa, n'eleghị anya **n'ọnụ ego** ya.

**Ndị mgbere** ndị ọzọ nwechara ụzọ ha si eme ka ahịa ha na-aga n'ihu. A bịa na ndị na-ere ùde, nchà, na **ngwa nchọmma** ndị ọzọ, ùsòrò nke ha bụ isēpùtà **ùgòrìcha mmā** nwoke na nwaanyị na foto, wee na-egosi anyị etu anyị nwere ike ịmaru mma, ma anyị goro ngwa ndị ahụ. Keduzi maka ndị ahịa ọgwụ? Ò nwèrè onye na-anụtụbeghị ụ̀dị **ọkwā à:**

'Ǹụọ otu mkpụrụ ọgwụ rọba a ka o kpochapụ gị ọrịa gị ǹiile.'

Ma ọ bụ nke a:

'Goro **vitamin** a, ka o nye gị na ndị ezi na ụlọ gị, ogologo ndụ na ahụ ike.'

Ihe dị n'ịtụnanya bụ na ọtụtụ mmadụ na-agbaga ịzụrụ ọgwụ ndị ahụ, n'ajụghị ma ọkwa ndị ahụ ha **na-agba ezi àmà,** kà ọ̀ bụ̀ nke **ụgha.**

Ma, kedu ihe na-eduba anyị n'ịzụ ihe na ihe anyị hụrụ, ma ọ dị anyị mkpa, ma ọ dịghị? Nke mbụ bụ na onye ọ bụla na-achọ **ụ̀wà ọma;** n'ihi nke a, anyị na-ego ihe dum anyị chèrè ga-emeziri anyị ụ̀wà. Nke ọzọ bụkwa **àkpịrī.** Ọtụtụ mmadụ na-achọ inweta **ọ̀gbàrà ọhụ̄rụ** ọ bụla, tụmadị ndị n'ime anyị ọ na-adị kà ọ bụ ụwa ha kacha njọ, ma ha esoghị nwere **ihe ndị na-ewù.** Anyị agaghị àgụpù nzuzù n'okwu a. I chetara oge gara aga ndị nwaanyị dum na-agbaga, na-azụ akwà a na-akpọ 'Ejekọmbelọya'-ma **ha nwerè ìkpe,** ma ha enweghị. Ebe a ka ụfọdụ mmadụ ga-asị na ndị ahịa **jì ọgwụ̀.** Ma mụ onwe m, echeghị m na ọgwụ batara n'okwu a. **Oke ōchịchọ** — egwù, akpịrị ogologo, nzuzu — ndị a bụ ihe ụfọdụ na-adọga anyị n'ahịa. Na nke ha, ndị ahịa. ma, na ha jidehaa **ire ọma,** ọ ga na-akpọtụ mgbe dum n'ọdụ ha.

Ugbu a, gbalịa kọwachaa okwu ndị a na nghọta omimi ha. E mechaa, onye ọ bụla ga-ededa nkọwa dị ka onye nkuzi siri dee ya na bọọdụ.

| *MKPỤRỤOKWU* | *NKỌWA* |
|---|---|
| ọdụ̀ | |
| aha ... ha na-etu | |
| kpọ̀tụba | |
| ụ̀ghàlàmà | |
| na-aghọ̀rị | |
| ọnụ ēgo | |
| ndị m̄gbere | |
| ngwa ǹchọmmā | |
| ụgoricha mmā | |
| ọkwà | |
| ọgwụ̀ rọbà | |
| vitamin | |
| nà-agba ezi àmà | |
| ụ̀gha | |
| ụ̀wà ọma | |
| àkpịrị̄ | |
| ọ̀gbàrà ọhụrụ̄ | |
| ihe ndị na-ewù | |
| nwèrè ìkpe | |
| jì ọgwụ̀ | |
| oke ọ̄chịchọ | |
| ire ọma | |



## 12D Nnyocha eserese na odide ǹkà

**Ndụmọdụ**

Leruo anya ala n'eserese a. Olee ihe ị hụrụ? Gịnị na-eme? Debaa ahịrịokwu atọ ma ọ bụ karịa n'akwụkwọ gị maka otu ihe dị n'ime ya. O nwere ike ịbụ akụkọ ma ọ bụ mkparịta ụka, leta, ma ọ bụ ederede ozuruọha nke 'Udoka', abụ̀ ma ọ bụ ihe ọ bụla masịrị gị. Mana ihe dị mkpa bụ na o si n'ime eserese a pụta, na ọ na-enyekwa obi ụtọ.



## 12E Ajụjụ mmụgharị

1 Akụkọala a rụtụrụ aka n'ihe abụọ:
Olee ndị ha bụ?
a) ékèrè
b) ụsọrọ ọchịchị
ch) omenaala
d) nhiwe obodo

2 Ekwema ji abalị pụọ n'ihi na:
a) Ndụmụọha chọrọ igbu ya
b) Ọ chọghị ka ha sewe okwu
ch) Ọ chọghị ka Ndụmụọha nara ya ọkwa ya dị ka diokpara
d) Ọ chọghị ka mmadụ mara.

3 Olee ndị na-esoghị Ekwema na njem ya?
a) Ikenaegbu
b) Amatụ
ch) Maazị Okeegbe
d) Ọgọ ya.

4 Ọgọ Ekwema bụ onye
a) Ụrata
b) Òwèrè
ch) Ụmụọfọ
d) Emeke.

5 Mkparịta ụka bụ nkata na-aga
a) n'etiti otu onye
b) n'etiti mmadụ abụọ
ch) n'etiti mmadụ abụọ ma ọ bụ karịa
d) n'etiti di na nwunye.

6 Kedụ nke dachapụrụ adachapụ?
Ndị na-akparịta ụka na-akpa maka
a) onwe ha
b) ndị ọzọ
ch) gburugburu ha
d) ụwa nrọ.

7 Kedụ nke na-esoghị na njirimara ahịrịokwu mkparịta ụka?
a) Ọkọtọokwu.
b) Kwunkwugharị.

ch) Nkwụsị ike.
d) Enwemotu njikọ.

8 Degharịa ahịrịokwu ndị a n'ụzọ ọzọ
a) Ezigbo ego ka ahụ m chọrọ
b) Ọ bụkwanụ arụ bụ ihe a.
ch) Ogu ka m kpọrọ
d) Ekweekwe ka ị bụ

9 Mkparịta ụka na-egosị na:
a) onye kwuo, ibe ya anaghara ya okwu
b) onye kwuo, ibe ya akụchapụ ya okwu
ch) onye kwuo, ibe ya ebighọọ ya
d) onye kwuo, ibe ya agbachie ya nkịtị.

10 Kedụ nke ya na mkparịta ụka yiri onwe ha?
a) mbibiụka
b) nrụrịtaụka
ch) ntụkọụka
d) ndọrọndọrọụka.

11 Kedụ akwa na-esoghị na ndị na-ewuru ụmụ nwaanyị ugbu a?
a) 'Ọbọ mma'
b) 'Obi di ya'
ch) 'Rerekerereke'
d) 'Mkpụrụ ọka'.

12 'Ugoricha mma' na-egosị
a) Ugo mara mma
b) Ugo ọcha
ch) Ọ dị mma eme njọ
d) Ọmaricha.

13 Ihe anọ na-eduba anyị n'ịzụ ihe na ihe anyị hụrụ bụ
a)
b)
ch)
d)

14 *'Kpọtụba' na akwa ndị ọzọ* bụ ederede:
a) na-akọrọ anyị maka akwa dị iche iche
b) na-ạdụ anyị ọdụ



ch) na-agwà anyị banyere omume ndị mgbere ahịa
d) na-abara anyị mba n'omume ọjọọ.

15 Olee nke bụ ezi okwu?
a) Ndị mgbere akwa ji ọgwụ aranye mmadụ n'ịzụrụ ngwa ahịa ha.
b) Ndị na-ere ude na-ete mmadụ ude iji gosị na ngwa ahịa dị mma.
ch) Ndị ahịa na-enye mmadụ mkpụrụ ọgwụ ka ọ nụọ tupụ ọ zụrụ ọgwụ.
d) O nweghị nke bụ ezi okwu.

16 Olee nke na-adabaghị?
a) Ọtụtụ ndị mgbere enweghị ụzọ ha si eme ka ahịa ha na-aga n'ihu.
b) Ịma ọkwa na-enyere ndị na-ere ọgwụ aka.
ch) Oke aha na-aranye ụmụ nwaanyị n'ịzụrụ ha.
d) Ha niile dabara.

17 Olee nke na-adabaghị?
a) Ọtụtụ aha a na-aba akwa na-akpa ọchị.
b) Ndị mmadụ na-azụ ngwa ahịa n'agbanyeghị na ọkwa ndị ha na-anụ pụrụ ịbu ụgha.
ch) Ọkwa ha apụghị bụrụ ụgha.
d) Ha niile dabara.

18 ... na-eduba ndị mmadụ ịzuru ngwa ahịa
a) akpịrị
b) ịchọ ụwa ọma
ch) nzuzu
d) ọmụ̀mụ̀.

19 Onye dere edemede a kwadoro na
a) ndị mgbere na-eji ọgwụ
b) iyi akwa jọrọ njọ
ch) ụmụ nwaanyị nwere nnukwu ego
d) ndị ji ire ọma ere ahịa

20 Ndị ahịa ma na....
a) ire ọma n'ịzụ ahịa dị mkpa
b) iti mkpu na-eduba mmadụ n'ịzụrụ ahịa
ch) ịtụ mgbere ude kacha dị uru
d) ka akwa na-adawanye ọnụ bụ ka ndị nwaanyị na-ahapụ ịzụ ha.

## Ọ̀kàasụ̀sụ Ìgbò dị n'ime akwụkwọ a

*abụ̀* - otu nkenụụdị agụmagụ (poetry; poem)
*abụ̀ nkatọ̀* - abụ e ji akatọ ihe (satirical poem)
*abụ̄ ọgbụgba* - abụ otu nzizo dị ka mmanwụ, ekpo, odo
*abụ̄ òtito* - abụ e ji eto ihe (praise poem)
*ahịrị* usoro okwu dị n'abụ (line of verse)
*ahịrịokwu* - usoro okwu nwere ngwaa nghọta ya zuru oke (sentence)
*ahịrịajụ̀jụ* - ahịrịokwu mpụtara ya zipụtara ajụjụ
*ahịrị kendabè* - usoro okwu na-enweghị ike ịkwụụrụ onwe ya (dependent sentence)
*ahịrịmbụrụna* - ahịrịokwu mpụtara ya zipụtara mbụrụ (conditional sentence)
*ahịrịmfe* - ahịrịokwu nwere naanị otu ngwaa, nghọta ya zuru oke (simple sentence)
*ahịrị kemkpabiri* - usoro okwu a kpabiri akpabi (shortened sentence)
*ahịrịǹhà* - ahịrịokwu nwere ngwaa zuru oke abụọ, (compound sentence)
*ahịrị kènkwuwa* - usoro okwu na-arụ ọrụ nkwuwa (adverbial clause)
*ahịrịn̄jụ* - ahịrịokwu mpụtara ya ziputara njụ
*ahịrịnkwụgba* - ahịrịokwu nwere ọtụtụ njikọ n'ime ya
*ahịrịnkwusa'/nkwe* - ahịrịokwu mpụtara ya na-ekwu ihe bawam, n'abụghị njụ ma ọ bụ ajụjụ (declarative sentence)
*ahịrịùkwù* - ahịrịokwu nwere ngwaa olemaole mana naanị otu zuru oke (complex sentence)
*akàràedemede* - akara ndị e ji edezi edemede ka o kwe ọgụgụ (punctuation marks)
*akụkọ* - d.k. akụkọ ala: akụkọ na-ezipụta ihe mere eme (historical story)

akụkọ ifo: akụkọ na-ezipụta ihe ndị emeghị eme (folktale)

akụkọ n'abụ, akụkọ e ji abụ àgụ

akụkọ n'egwu akụkọ e ji egwu àgụ

*arụmarụ* - ọrụ a ga-arụ (exercise)
*asịniilu* - otu ahịrịokwu dịwa ka ilu (wellerism)



*ndokọ* - nnọkọba mkpụrụokwu olemaole n'usoro dabara adaba (structure)
*nghọtasinụụda* - okwu bụ na e nwere ike si n'ụda ya mata mpụtara ya
*ǹkà ide edemede* - iji ǹkà dee edemede (creative writing)
*njirimara* - ihe ndị e ji amata ihe ọ bụla (characteristics)
*nkebiahịrị* - okè nkerisi dị n'ahịrịokwu; usorookwu nwere ngwaa mara mpụtara ya ezuchaghị oke (clause)
*nkebiahịrị keàhà* - nkebiahịrị nà-arụ ọrụ aha (noun clause)
*nkebiahịrị kenkọwa* - nkebiahịrị na-arụ ọrụ nkọwaha (adjectival clause)
*nkebiahịrị mbụrụna* - nkebiahịrị mpụtara ya zipụtara mbụrụ (conditional clause)
*nkebiokwū* - usoro okwu na-enweghị ngwaa ọ bụla (phrase)
*ǹkènụ̀ụ̀dị* - nkerisi (phrase) ngalaba dị n'ihe ọ bụla
*nnwale* - ihe dị ka ule (evaluation)
*nsòròedide* - abịdịị na ihe ndị e ji ede asụsụ ọ bụla (orthograph)
*soromchịa* obere akụkọ na-atọ ọchị (joke)
*ụ̀dàolū* - ihe pụtara ihe n'asụsụ dị ka Igbo, n'ihe gbasara ụda (tone)
*ụkàbụilu* - obere akụkọ yiri akụkọ ifo (anectode)
*usoro okwu* - aha na mkpụrụokwu ọ bụla ya na ya naagakọ.